Ẹkwo
# Azáya
## Onye Mpfuchiru Chileke

1 Ọwaa bụ ọphulenya iphe, e-me l'alị ndu Jiuda yẹe
mkpụkpu Jierúsalẹmu. Onye phụru iya nụ bụ Azáya nwa
Emọzu. Teke ọ phụru iya bụ teke ndu-a bụ eze ndu Jiuda,
bụ iya bụ Uzáya; Jiótamu; Éhazu; yẹe Hezekáya.

*Chileke abar*ụ ndibe iya mba
2 Gụbe igwe; nụmakwa! Gẹ gụbe alị ngabẹkwa nchị;
kẹle Chipfu pfuakwaru opfu. Ọ sụru-a: "Mu hewaru
ụnwegirima mu; mee phẹ metsee; tẹme ẹphe gbẹ bya
ekwefụru mu ike. 3 Eswi makwarụ onye nwe iya nụ.
Nkapfụ-ịgara bya amaru iphe, onye nwe iya nụ eyejeru
iya nri; obenu lẹ ndu Ízurẹlu ta adụdu ọphu ẹphe maru;
mbụ lẹ ndu ono, bụ ndibe mu ono bẹ iphe edoduru
ẹnya."
4 Oowaa! Unubẹ ọha iphe-ẹji-a! Unubẹ ndu ẹjo-iphe
jiru ẹhu-a! Eri ndu ẹjo-ememe-a! Ụnwegirima ụrwuali-
a! Ndu-a gwọbewaru Chipfu. Ẹphe ta agụbeeduru Onye
nsọ kẹ ndu Ízurẹlu iphe; ẹphe woru azụ ghaaru iya.
5 ?Dẹnu g'o gude e je a-nụ unu aphụ ọzo? ?Bụ gụnu
meru g'o gude unu kwẹe ẹka l'ekwefuru Chileke ike? Ishi
bụkotawa unu ọ́nyá ọ́nyá; tẹme meji nọdu ebuhuwaa unu
ebuhu. 6 E -shikpọo l'ichirupfu-ọkpa unu jasụ l'echi ishi
unu ta adụedu ẹka iphe te emedu unu. Iphe, dụkota iya
nụ bụ igbiri-ẹchachi; mẹkpoo ọ́nyá; mẹkpoo ẹka alwa
unu mee tọritori, adụdu ọphu a sarụ asasa; ọphu ọ dụdu
ọphu e kechiru ekechi; ọphu ọ dụdu ọphu e meberu
ọbvu.

7 Alị unu bụwaa ochobu. Mkpụkpu unu bụru iphe, ọku
tsufugbaaru. Opfu, unu kọru bẹ ndu ọhozo nọ l'iphu
unu eripya. Ọ dabyiru karaphongu g'ẹka ndu ọhozo
lwụru. 8 E woru ada Zayọnu ono tọgbo okorobo gẹ nwa
m̀kpù, a tụru dobe l'opfu-vayịnu; gẹ nwụlo-ẹgu, a kpụru
l'ẹgu akpụru-eli; gẹ mkpụkpu, ndu ọhogu iya nọ-pheru
mgburugburu. 9 Ọ -tọ bụ lẹ Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-
Ike harụ haphodoru anyi nwandu ọphu phọduru nụ; mẹ
anyi adụepho gẹ mkpụkpu Sọdomu; mbụ-a; anyi gege
adụepho gẹ mkpụkpu Gọmóra.

10 Unu nụmakwa Opfu Chipfu; unubẹ ndu-ishi ndu
Sọdomu! Unu ngabẹkwa nchị nụma ekemu, Chileke anyi
tụru; unubẹ ndu Gọmóra! 11 Ọ sụru-a: “Ọ tọ dụedu
iphe, mu gụberu ikpoto ngwẹja, unu anọduje egwe anụ
mu. Ebili ono, unu akpọje ọku nụ mu ono; yẹe ẹba-
anụ unu ndu ọphu kachaa ree; jiakwaru mu ẹpho jigharu
mu iya ẹka. Mee eswi; yẹe kẹ nwatụru; yẹe k'eghu te
emejeẹkwa g'iphu tụsahu mu. 12 G'unu abyajẹ l'iphu
mu; ?bụ onye asụje unu g'unu bya; mbụ g'unu byaru
mu azọtoshiru ọma-unuphu? 13 Unu ta abyajẹhekwa
mu anụ iphe, adụdu iphe, ọ bụ! Ụ̀nwù-isẹnsu, unu
akpọje ọku nụ mu tụkoakwaru bụru mu ahụma ahụma.
Ọbo Ọnwa-ọ̀phúú; mẹ ọbo eswe-atụta-unme; mẹkpoo
ekukọbe, unu ekukọbeje onwunu g'ọ ha; dụkotakwa mu
ashị. Ọ bụepho l'ọ tọ dụedu ẹjo ndzukọ unu ọphu
adụadaa mu ashị. 14 Ọbo-ọnwa-ọ̀phúú, unu anọduje abọ;
mẹkpoo ọbo-iphe unu ọzokpo, bụ ndu ọphu geru egeru
dụkotakwa mu ashị. Ẹphe tụkowaru anyị mu ẹrwa. Mu
tanyawaru iya nshi; ike bvụwa mu.

15 “G'unu achị-lije ẹka epfu anụ mu-a bẹ mu ewofu-
jekwa ẹnya l'ẹka ono. Unu -pfuru nụ mu nta pfua imo;
mu ta angadu nchị; kẹle ọchi nọ unu l'ẹka. 16 Unu jenụ
asachaa onwunu; mee onwunu g'unu gbuchafụ! Unu

wofunu ẹjo-ememe ono, unu eme ono l'iphu mu! Unu
hanaa eme ẹjo-iphe! 17 Unu nwụnaa eme iphe, dụ ree!
Unu chọnaa ikpe, pfụru nhamụnha! Unu ahụ̀a ndu eme
ndu ọzo ewere ahụ̀hù! Unu gbajẹnuru nwogbee, enwedu
nna ọdzori! Unu agbachitajeru nwanyị, ji iya anọedu
ndzụ!"

18 Wakwa iphe, Chipfu epfu baa: "Unu byanụ g'anyi
chịa ìdzù; g'ìdzù anyi tụko wụa nanụ! iphe-ẹji unu -
dụchakpoonu ẹji eke uswe-uswe bẹ oo-mechaa chaahaa
pemu pemu g'aka-mini-sunoo. Teke ọ bụ l'ooke gbog-
bogbo g'uswe bẹ oo-mechaa chaahaa phuuphuu g'oghu
ọchaa. 19 Ọ -bụru l'oohe unu ihee; tẹme unu nọdu emeje
iphe, a sụru g'unu mee bẹ unu e-rikwa iphe, kachaa ree,
shi l'alị-a. 20 Obenu teke unu jịkaru bya ekwefu ike bụkwa
ogu-echi bẹ a-sụjashi unu. Nokwa iphe, shi Chipfu l'ọnu
bụ ono."

### *Jierúsal*ẹmu bụ mkpụkpu, eme iphe-ẹji

21 Lewarọ gẹ mkpụkpu ono, e shi gude ẹka ono byaru
bya abụru ovuọba! Mbụ mkpụkpu, dụru teke bụepho
ikpe, pfụru ọto bẹ e shi anọduje iya ekpe; mkpụkpu,
apfụbekoto shi buru eburu l'ime. Nta-a bẹ ọ bụwaa
ndu egbu nemadzụ bu iya. 22 Mkpọla-ọchaa, i shi nweru
bụwaa nshị-mkpọla. Ẹguru mẹe ngu ono bụwaru iphe,
e gude mini gwanyịshia. 23 Ndu-ishi l'ime ngu bụkotawa
ndu kwefuru Chipfu ike; bya abụru ndu ẹphe lẹ ndu-oshi
gba l'ọgbo. G'ẹphe ha yeru ẹnya l'eri ụphalazu. Tẹme ọ
bụerupho g'a nụ phẹ; l'adụje phẹ ree. Onye enweẹdu
nna bẹ ẹphe ta agbajẹduru ọdzori; ọphu ẹphe angajẹdu
nchị l'opfu ẹhu nwanyị, ji iya anọedu.

24 Noo g'o gude Nnajịụphu; mbụ Chipfu, bụ Ọkalibe-
Kakọta-Ike; mbụ Ọkalibe kẹ Ízurẹlu pfua sụ: "Ịhee; gẹ
mu bya emee ndu mu l'ẹphe dụ l'ụkukanyi iphe; gude

dụa onwomu obu. Gẹ mu bya egude ndu ọhogu mu gwata
ụgwo iphe l'onwomu. 25 Gẹ mu bya adaa unu ẹka kẹ njọ.
Gẹ mu bya ahụchafuchaa nshị-mkpọla ono, a gwakọberu
unu ono rengurengu; bya atụko ẹrwu, dụ unu l'ẹhu
rwushia. 26 Mu e-dophuchaa ndu-ikpe unu azụ g'ẹphe dụ
g'ẹphe shi dụ teke ndiche. Mu emee ndu akpọ-zijeru unu
ụzo g'ẹphe dụ g'ẹphe shi dụ lẹ mbụ. E -mechaa l'aawata
unu eku mkpụkpu, pfụberekoto; mkpụkpu, e gude ẹka.”

27 Mkpụkpu ono, nọ l'eli úbvú Zayọnu ono bẹ ee-gude
ikpe, pfụru ọto gbafụta. L'e gude apfụbekoto gbafụta
ndu izimanụ lwarụ azụ lẹ mkpụkpu ono. 28 Obenu lẹ
ndu kwefuru Chipfu ike; mẹ ndu iphe-ẹji bẹ aa-tụko
tsupyashịa. Tẹme iphe, bụkpoo ndu gwọberu Chipfu
abụkotaru ọla-l'iswi.

29 Achị ono, aasọgbaa nsọ ono e-mechaa mee unu
iphe-iphere; g'ọ bụ iya bẹ unu yeru ẹnya-a; mbụ lẹ
mgbabu ngwẹja ono, unu họtaru ono e-mechaa tụ unu
ẹberebete; 30 kẹle unu e-mechakwaa dụ g'achị, larụ
ẹkwo; mbụ g'opfu, a kọru l'ẹka mini adụdu. 31 Ndu
shihuru ike e-mechaa dụ g'ẹphuuruu. Ozi, ẹphe jeru
abụkotaru ẹkoroku; kẹle ẹphenebo a-tụko kekọta ọku;
ọphu ọ dụdu onye sụru agbanyị ọku obu.

# 2

## Ẹhu-guu ojejoje

(*Mayị* 4:1-5)

1 Ọwaa bụ ọphulenya,
Azáya nwa Emọzu phụru l'ẹhu
ndu Jiuda yẹe ndu Jierúsalẹmu.
2 Sụ-a; o -rwua teke ikpazụ
bẹ ee-me g'eli úbvú ono,
a kpụru eze-ụlo Chipfu
ono ngụru angụru;

mee ya g'ọ bụru eze l'ẹka
iphe,
bụkpoo úbvú ọzo nọgbaa.
Mbụ l'ee-me iya g'ọ kakọta
úbvú ọzo l'eli.
Noo teke ọhamoha a-nọdu
awụ awụ-pfu iya.
3 Ikpoto nemadzụ a-bya bya asụ:
"Unu bya g'anyi je l'eli úbvú
kẹ Chipfu!
Unu g'anyi je l'ụlo Chileke
kẹ Jiékọpu!
Ọo ya e-zi anyi ụzo iya;
k'ọphu anyi a-wata
etso ụzo, ọ tọru."
Noo kẹle ekemu e-shi l'úbvú
Zayọnu fụta;
mbụ l'opfu Chipfu e-shi lẹ
mkpụkpu Jierúsalẹmu
bya.
4 Ọo ya e-doshi opfu,
dụgbaaru ọha yẹe ọha
ibe iya.
L'ọ bya edoshiaru ikpoto
nemadzụ opfu,
dụru phẹ nụ.
Ẹphe e-woru ogu-echi phẹ
kpụkwaa l'ọ bụru ọgu;
woru arwa phẹ kpụa
l'ọ bụru nwa mma,
e gude akọcha iphe.
Ọ tọ dụedu ọha,
a-patakwadu ogu-echi

ejepfu ọhozo ọgu;
ọphu ẹphe anwụedu alwụ
ọgu ọzobaa.
5 Unubẹ ọnu-ụlo Jiékọpu;
unu byanụ g'anyi tsoru
ìphóró ọphu Chipfu
nwụberu anyi.

*Eswe k*ẹ Chipfu

6 Ị jịkawaru ndibe ngu ono; mbụ ọnu-ụlo Jiékọpu
onoya; kẹle ọmamanshi ndu shi ụzo ẹnyanwu-awawa
jiru iya ejiji. Tẹme ẹphe nọdu agba ẹja gẹ ndu Filisi-
tayinu. Ẹphe lẹ ndu ọhozo je akụa ọkpa. 7 Alị phẹ bụ
iphe, jiru iya nụ bụ mkpọla-ọchaa mẹ mkpọla-ododo.
Ọphu ẹku phẹ abvụdu abvụbvu. Alị phẹ bụ iphe, jiru
iya nụ bụ ịnya; ọphu ụgbo-ịnya phẹ abvụdu abvụbvu.
8 Alị phẹ bụ iphe, jiru iya nụ bụ nshi nshi; ọ bụru iphe,
ẹphe abarụ ẹja bụ iphe, ẹphe gude ẹka phẹ gẹdegede
mee.
9 Noo g'o gude e jee ewoze nemadzụ alị. Mbụ l'amadụ
bẹ ee-me g'o rwua alị. B'a gụkwaru phẹ nvụ!
10 Gbanụru laa l'agbara-mkpuma! Je je edomia on-
wongu l'ime alị; kẹle ịitsu Chipfu ebvu; tẹme akpabiri
iya nọdu eye ngu ebvu! 11 Onye etu onwiya ẹpha bẹ ee-
mechaa mee g'ẹnya lwa. L'e mee gẹ ndu etse etsetse
phuru yoo. Ọ bụru Chipfu kpoloko bụ onye ee-kutse
m'o -rwua mbọku ono. 12 O nwekpọerupho ujiku lanụ,
Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike doberu iphe, bụkpoo ndu
eku onwophẹ yẹe ndu akpa nggangga; bya edobekwaru
iya phọ ndu ekutse onwophẹ. Ọo mbọku ono bẹ ee-kuze
phẹ alị. 13 Mbọku ono bẹ e doberu iphe, bụ oshi sida,
nọ l'úbvú úbvú Lébanọnu, bụ oshi, tsekọtaru agbaragba
bya ajaa àjàjà; bya edobekwaru iya phọ iphe, bụkotakpoo
achị, nọ l'alị Beshanu; 14 bya edoberu iya úbvú úbvú,

hagbaa ephekerephe ephekerephe; mẹ obvu, ha l'eli l'eli.
15 O doberu iya iphe, bụkpoo ọje, hagbaa ephekerephe;
mẹkpoo igbulọ, a kpụshiru ike; 16 mẹkpoo ụgbo-mini
ndu Tashishi g'ọ hakọta; mẹkpoo iphemiphe, e meru;
ọ nọdu ama mma. 17 Onye etu onwiya ẹpha bẹ ee-
me g'ẹnya lwa. L'e mee gẹ ndu etse etsetse phuru yoo.
Ọ bụerupho Chipfu kpoloko bẹ ee-kutse mbọku ono.
18 Nshi ta adụedu adụdu ophu kpọ.

19 Mbọku ono bẹ nemadzụ a-gbaru laa l'ọgba, nọ
l'agbara-mkpuma; gbaru laa l'ẹnu, a tụru l'alị; kẹle ẹphe
atsụ Chipfu ebvu; tẹme akpabiri iya nọdu eye phẹ ebvu
teke ono, ọo-gbalihu gẹ ya nmaghua mgboko l'ophu
anmaghu ono. 20 Mbọku ono bẹ nemadzụ a-chịru nshi
ono, ẹphe gude mkpọla-ọchaa mẹ mkpọla-ododo mee
dobe agwa agwagwa ono chịru phekaaru anụ, bụ molu
yẹe ụtsu-nwankụta. 21 Ẹphe a-gbaru laa l'ẹka agbara-
mkpuma gbaru ụwa; mẹkpoo l'ime ọgba, nọgbaa l'eli
úbvú; kẹle ẹphe atsụ Chipfu ebvu; tẹme akpabiri iya
nọdu eye phẹ ebvu teke ono, ọo-gbalihu gẹ ya nmaghua
mgboko l'ophu anmaghu ono.

22 Hanaa akpọru obu yeru nemadzụ; kẹle mkpakọ
iphe, o nweru bụ unme, ọotu l'imi. ?Bụ gụnu ọzo bẹ
oo-mefụba ọ́nyá?

# 3

*Ikpe, d*ụru ndu Jierúsalẹmu yẹe ndu Jiuda

1 Sụ-a; lekwa lẹ Nnajịuphu, bụ Chipfu; bya abụru
Ọkalibe-Kakọta-Ike abyakwa anafụ ndu Jierúsalẹmu;
yẹe ndu Jiuda ẹka iphe eshije erwu phẹ ẹka. Ọobya
phẹ anafụ ẹka ẹphe eshije akpata nri; mẹ ẹka ẹphe
eshije ekuta mini-angụgu; 2 nafụ phẹ ndu ike dụ; mẹ ndu
ojọgu; nafụ phẹ ndu-ikpe; mẹ ndu mpfuchiru Chileke;
nafụ phẹ ndu agba ẹja; mẹ ndu bụ ọgerenya; 3 nafụ phẹ

ndu-ishi ndu ojọgu; mẹ ndu nweru ọkwa; nafụ phẹ ndu
mgbazi; mẹ ndu maru eme ọna; mẹkpoo iphe, bụ ndu
agba ẹja doru ẹnya. 4 Mu e-me g'ọ bụru ụnwokorobya,
a-bụru ndu-ishi phẹ; mbụ l'ọo ndu angụkwadu ẹra
a-bụjeru eze phẹ. 5 Ndiphe a-wata akpa nwibe phẹ
ẹhu. Onyenọnu l'ọodaru yẹe nwibe iya; obutobu yẹe
obutobu iya adụru l'opfu. Ụnwu-ọgbo-lanụ etso ndu bụ
ọgerenya opfu. Ndu adụdu iphe, ẹphe bụ etsokwaphọ
ndu aakwabẹ ùbvù opfu.

6 A -nọnyaa; nemadzụ azụ nwanna iya gburumu; mbụ
onye shi l'ibe nna iya; zụ iya gburumu sụ: "Ọo ngu a-bụru
ishi anyi eshinu i nweru uwe nwilile. Ọ bụru ngu maru
g'ii-me mekọta ọla-l'iswi-a."

7 Noo teke onye ono a-rashị sụ: "Waawakwa-o! Mu
ta asụkwa iya emekọta. Mu te enwekwa nri; ọphu mu
enwekwa uwe, eeye l'ẹhu. Unu te emekwa mu onye-ishi
ndu ndu-anyi-o!"

8 Ọ bụru iphe, kparụ iya nụ bụ lẹ ndu Jierúsalẹmu
bẹ ụpfu dụru l'ọkpa. Mbụ lẹ ndu Jiuda adawaa iko.
Iphemiphe, ẹphe epfu epfupfu; yẹe iphe, ẹphe emekọta
ememe tụkoru bụru emeswe Chipfu; mbụ atụrwuepho
atatiphu Chipfu ono, egbu nwịinwii ono. 9 G'iphu gbaru
phẹ bụkpoada iphe, agba phẹ ekebe. Ẹphe nọdu
anọduje asa iphe-ẹji phẹ asasa gẹ ndu Sọdomu. Ọphu
ẹphe edomidu iya edomi. Nshịo phẹ! Noo kẹle ẹphe
gudewaa ẹka phẹ setarụ onwophẹ eze iphe-ẹhuka.

10 Karụ onye pfụberekoto l'ọo-dụru iya lẹ ree; kẹle oo-
ri akpụru, eme ọma iya mịtaru. 11 Nshịo ndu ẹjo-iphe;
kẹle ẹphe a-lakọta l'iswi. Aa-pfụ phẹ ụgwo iphe, ẹka
phẹ metaru.

12 Ndibe mu bụ ụnwokorobya akpa phẹ ẹhu. Tẹme ọ
bụru ụnwanyi bụ ishi phẹ.

Sụ-a; ndu mu! Ọ kwa ndu edu unu ụzo gude unu ephu
ụzo. Ẹphe duru unu haa ụzo shiahaa ọphu abụdu ụzo.

### *Ikpe, Chipfu e-kpe ndibe iya*

[13] Chipfu nọakwa l'ẹka ọo-nọdu kpee ikpe l'ụlo-ikpe.
Ọ gbalihuwaru pfụru gẹ ya kpee ndiphe ikpe. [14] Chipfu
watawarụ ekpe ndu bụ ọgerenya ikpe; waa ndu-ishi
ndibe iya sụ: "Ọ kwa unu mebyishiru opfu-vayịnu mu.
Iphe, unu gwetarụ l'ibe ndu ụkpa kụkwaru l'ibe unu. [15] ?
Dẹnu g'o gude unu gwee ndibe mu arakabya; bya egwee
iphu ndu ụkpa rwukuru rwukuru? Noo iphe, Nnajịuphu
epfu; mbụ Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike."

### Ọkwa, aanmaru ụnwanyi Jierúsalẹmu

[16] Chipfu sụru-a: "Ụnwanyi, bu l'úbvú Zayọnu
kunụkakwaru onwophẹ. Ẹphe abụjeru; ẹphe -nọdu
eje ije ẹphe eworu olu ngakobe alọ ẹnya vaavaavaa; tọ
nwẹhu eje degengu degengu degengu; azọ iphe, ẹphe
gba l'ọkpa jọgongu jọgongu. [17] Noo g'o gude Nnajịuphu je
l'eworu ẹkpa-ebyi ghaa ụnwanyi, bu l'úbvú Zayọnu l'ishi.
Mbụ lẹ Chipfu e-me g'ishi chaa phẹ swarịswari."

[18] Mbọku ono bẹ Chipfu a-nashịchaa phẹ iphe, ẹphe
gude ama mma; mbụ iphe ọbu, a zụru phẹ jọgoro-jọgoro
ọbu; mẹ ọphu ẹphe gude kechita ishi; mẹ ịyagba, ẹphe
tụkporu l'olu; [19] mẹkpoo iphe-nchị; mẹ iphe-ẹka; mẹ
ọphu e gude ekpuchi iphu; [20] iphe, e gude edozi ẹgbushi;
mẹ ịyagba-ishi-ikpere; mẹ ọlokpo, eeswe l'upfu; mẹ
ekpemu manụ, eshi mkpọ; mẹ nwanshi phẹ; [21] echi,
ẹphe agba lẹ mkpụshi-ẹka; mẹ ọphu ẹphe eye l'imi;
[22] ẹguru uwe kpowula-kpowula phẹ; mẹ ukpo phẹ; mẹ
ẹkwa achịchi phẹ; mẹkpoo nwẹda okpoga phẹ; [23] mẹ
onyo phẹ; mẹ nwẹguru uwe ọchaa ẹphe eyeje l'ime
ẹhu; mẹ ẹkwa, ẹphe agbaphuje l'ishi; mẹ ọphu ẹphe
ajịkobeje l'ukuvu.

24 Noo g'ọo-dụ; teke ẹphe gege anọdu ete iphe, eshi
mkpọ; ẹphe eshiaha ishi. Teke ẹphe gege edo onwophẹ
ọlokpo l'upfu; ẹphe ekebechia onwophẹ eri. Teke ẹphe
gege enweru ẹgbushi, ama ntụmatu; ẹphe akpụshia
ishi akpụshi. Teke ẹphe gege eye uwe, ama ntụmatu;
ẹphe eyechia uwe-aphụ. Mma ono, ẹphe shi ama ono
aghakọbe bụru iphe-iphere.
25 Unwoke unu bụ ogu-echi bẹ ee-gude gbushia
phẹ. L'a tụko ndu ojọgu unu gbushia l'ọgu. 26 Ọnu-
abata Jierúsalẹmu echia mkpu ẹkwa gụa aphụ anwụhu.
Mbụ lẹ Jierúsalẹmu a-dụ gẹ nwanyị, gba ẹka nwa;
gwọdoshihu l'alị.

# 4

1 Ọzo bụ l'o -rwua teke ono bẹ ụnwanyi ẹsaa a-wụ-
pfutajẹ nwoke lanụ sụ iya: “Jiko nafụnu anyi iphere
ọwa-a! Hanaa g'ọ bụru-a l'anyi a-zarụ laaru ẹpha ngu.
Anyi a-nọdu-a azụ onwanyi lẹ nri; anmarụ onwanyi
ẹkwa.”

*Eedophu Jierúsal*ẹmu azụ l'ọnodu iya

2 O -rwua teke ono bẹ onye ono, bụ ẹkali Chipfu a-
nọdu ama ntụmatu; tẹme l'ọ dụkwapho akpabiri. Mebyi
iphe, amịshi l'alị a-bụru iphe, ẹphe e-gude eku onwophẹ;
bụru iphe, ẹphe e-gude dụ ùbvù l'ẹnya; mbụ nwa ndu
ọphu phọduru nụ l'alị ndu Ízurẹlu. 3 Nwa ndu ono,
phọduru l'úbvú Zayọnu ono; mbụ nwa ndu ono, phọduru
lẹ Jierúsalẹmu ono bẹ ee-kuje ndu dụ nsọ; mbụ ndu e
deru ẹpha phẹ lẹ ndu dzụ ndzụ lẹ Jierúsalẹmu. 4 Ọ
bụru Nnajịụphu a-sachafụ inyinyi, dụ nwada Zayọnu
onoya l'ẹhu. Oo-gude unme nkiya sachafụ mee, tụkoru
Jierúsalẹmu ẹhu; mbụ unme ọphu o gude ekpe ikpe bya
abụru unme, enwu ọku. 5 Ọo ya bụ; Chipfu abya l'úbvú
Zayọnu l'ophu; mẹkpoo iphe, bụ ndu ono, edzukọbeje

l'ẹka ono; bya emeta urwukpu, akpụ tụutuutuu doberu phẹ l'eswe; meta ọku, enwu phoophoophoo doberu phẹ l'ẹnyashi; kẹle ẹka ono g'ọ ha bẹ ee-gude ọdu-biribiri Chipfu kpuchia.
6 Ọo-bụru ikpuka bụru ìbvù dụru phẹ g'okpomọku taa dụ phẹ l'eswe; bya abụkwarupho ẹka ẹphe a-gbabajẹ je anọdu zee ndzụ; yẹe ẹka ẹphe e-domije onwophẹ mẹ igwe -nọdu alwa yẹgeyege mini; yẹe m'ọ -nọdu edze oke mini.

# 5

*Ebvu k*ẹ opfu-vayịnu

1 Gẹ mu gụa ebvu nụ onye
mu yeru obu.
Mu e-gude opfu-vayịnu iya
gụa ya.
Onye mu yeru obu gbaru
opfu-vayịnu l'ọsu,
nọ l'ọkpa-úbvú.
2 Ọ hazeru iya ahaze bya
atụtushichaa ya mkpuma
bya ahọta akpụru vayịnu,
kachaa ree kụa ya.
Ọ bya akpụa ụlo-nche
dobe iya;
bya emetakwa iya phọ ẹka
aakụje mẹe.
Ọ nọdu ele iya ẹnya amịta
akpụru vayịnu, dụ ree.
Obenu l'ọ gbẹ bụru ẹjo
akpụru bẹ ọ mịtaru.

3 “Ọo ya bụ lẹ-a; unubẹ ndu bu lẹ Jierúsalẹmu; mẹ
ndu ọphu bu l'alị ndu Jiuda; unu yeẹshikwa ọnu l'ẹhu mu
l'opfu-vayịnu mu ono. 4 ?Bụ gụnu bẹ mu gege emebaaru

opfu-vayịnu mu-a, bụ iphe, mu emeadaru; meru g'o gude
mu lee ẹnya l'ọo-mịru mu mebyi, dụ ree; ọ bya amị
amịmi bya amịa ẹjo mebyi.
5 “Nta bẹ mu a-karụ unu iphe, mu e-me opfu-vayịnu
mu. Mu a-phọkashi iphe, e gude kpọ-buta iya akpọ-buta
g'iphe mebyishia ya. Mu etsukpọshia igbulọ iya haa ya
g'a zọo ya tọlitoli. 6 Mu e-me iya g'ọ bụru alị, a gbadoru
agbado. A taa kọchabaedu iya akọcha; ọphu eegbubaẹdu
iya ọgu. Ọo ya bụ g'olekarara; yẹe ọgara-mbo ezee l'ẹka
ono. Mu akaru igwe g'o to dzebaẹkwa mini wụshiru iya.”

7 Ọ kwa ọnu-ụlo Ízurẹlu bụ
opfu-vayịnu ono,
Chipfu,
bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike
gbaru ono.
Ọ bụru ndu Jiuda bụ
iphe ono, ọ kụru iya ono,
tụbaru iya l'ẹnya ono.
O shi ele ẹnya mgbazi;
ọ bụchiaru iphe,
ọ hụmaru
bụ mgbaghashị.
O lee ẹnya apfụbekoto;
ọ bụru iphe-aphụ bẹ
ọ hụmaru.

*Aph*ụ, Tsọru ndu Ízurẹlu

8 Nshịo unubẹ ndu anatajẹ ụlo yekwa l'ụlo unu; nata
alị onye ọzo yekwa l'alị k'unu; jasụ unu atụko ẹkameka
nata buru l'obotẹgu nkịnyi unu. 9 Chipfu, bụ Ọkalibe-
Kakọta-Ike pfuakwaru mu; mu nụma sụ: “Tororo opfu bụ
l'ụlo, dụ igwerigwe e-mechakwaa dabyiru iphoro. Mbụ
l'okoke ụlo ono, bụgbaa ẹguru ụlo ono e-mechakwaa

bụru ụlo, e te budu ebubu. 10 Ẹka ee-gude eswi iri, a
jịgbaberu ẹbo ẹbo kọo ọkoro ujiku ophu bẹ nwa mẹe-
vayịnu, aa-pyịtaje iya e-jijeẹpho otumu mẹe ẹto. Onye
kụru mebyi iphe, jiru ogbongu l'ọ wọta iya iphe, jiru
nkwẹka kpoloko.”

11 Nshịo ndu etehuje lẹ nchi-abọhu jeshia achọ ẹka
ẹphe a-ngụ mẹe; ndu angụje mẹe jasụ l'echi abalị;
mbụ jasụ ẹnya ekee phẹ vọo l'ẹka ẹphe angụ iya.
12 Ẹgube ndu ono egudeje une; mẹ ogelenda akụ l'ẹka
ẹphe abọ iphe. Ẹphe egbu opu; aphụ ụpyi; angụshi mẹe.
Ọle ẹphe ta akpadụ ishi iphe, Chipfu eme; ọphu ẹphe
akwabẹdu ozi, o gude ẹka iya jee ùbvù. 13 Noo g'o gude e
je akpụ ndibe mu lẹ ndzụ; kẹle iphe te edojedu phẹ ẹnya.
Ndibe phẹ, bụ ndu nweru ọkwa bụ ẹgu e-mechaa gbua
phẹ. Igwe-ọha phẹ a-bụru ẹgu-mini a-gụ-gbushi phẹ.
14 Ọo ya bụ l'alị-maa bẹ ẹgu kabawaa agụgu. Ọ saẹpho
ọnu kẹ gabala ghekahụ. Ọ bụru l'ime iya bẹ ndibe phẹ,
aakwabẹ ùbvù a-wụba. Igwe-ọha phẹ awụba iya; ndibe
phẹ ndu aswọje ụswo; mẹ ndu rigbarigba-mẹe a-tụko
wụda iya.

15 Noo teke ee-woze nemadzụ alị. Mbụ l'amadụ ta
adụedu iphe, ọo-bụkwaduru. Ẹnya alwa ndu etse etsetse.
16 Obenu l'ikpe, pfụru ọto ono, Chipfu, bụ Ọkalibe-
Kakọta-Ike kperu ono bẹ ee-gude kutsee ya ekutse. Mbụ
lẹ Chileke ono, dụ nsọ ono e-goshi lẹ ya dụ nsọ. Ọ bụru
apfụbekoto nkiya bẹ oo-gude goshi iya. 17 Noo teke atụru
a-ta nri g'ọ bụ l'ọ nọ l'ẹgu ẹka eecheje iya. Ụnwu atụru
ataaha nri l'ẹka iphe ndu eze larụ l'iswi.

18 Nshịo ndu egudeje ọkpukpu-ẹregede akpụ ẹjo-iphe
wuruwuru; tẹme ẹphe egude ọkpukpu-eswi akpụ iphe-
ẹji. 19 Nshịo ndu ono, asụje: “Gẹ Chileke menaa ẹgwegwa
mee iphe, ọo-dụ ike mee g'ẹphe hụma! G'o rwukpọnaa!

G'iphe ọbu, Onye Nsọ kẹ ndu Ízurẹlu tụberu ememe ọbu mekpọnaa g'ẹphe maẹduru iphe ọbu!”
20 Nshịo ndu ewojeru ẹjo-iphe kua iphe, dụ ree; woru iphe, dụ ree kua ẹjo-iphe. Ndu ewojeru ọchii dochia ẹnya ìphóró; woru ìphóró dochia ẹnya ọchii. Ndu ewojeru iphe, atsọ ilu dochia ẹnya iphe, atsọ ụtso; woru iphe, atsọ ụtso kua iphe, atsọ ilu.
21 Nshịo ndu edobesụje l'ẹphe maru iphe; dobesụkwapho l'ẹphe kwarụ ẹnya.
22 Nshịo ndu bụ iphe, e gude maru phẹ bụ angụ mẹe. Tẹme ọ bụru phẹ bẹ angụ ngwaragwa mẹe
wụkoru; 23 mbụ ndu ewehajẹ onye-ikpe nmarụ opfu
l'ọ nụru phẹ iphe-ụphalazu; bya anafụ onye iswi dụ
mma ikpe, pfụru ọto, e gege ekpe iya. 24 Ọo ya bụ lẹ-
a; ọ kwa g'ire-ọku erichajẹ ekperema ọkponku erichaa; ẹswa ọkponku alaa pyẹtee l'ọku, enwu phoophoophoo-a; nokwa g'ọgbarabvu phẹ e-repyahụ; okoko phẹ etsua duu g'urwuku; kẹle ẹphe jịkaru edobe ekemu, ọ tụru; mbụ Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike. Ọ bụru opfu Onye Nsọ
kẹ ndu Ízurẹlu ono bẹ ẹphe gbụru tụphee. 25 Noo g'o
gude ẹhu nọdu eghushi Chipfu eghu ike l'iphe, ndibe iya meru iya. O wolia ẹka chia phẹ gbaa; chikata phẹ tụa. Eli úbvú nọdu anma jiijiijii. Odzu phẹ dakaa pọopoo l'ọma gbororo. Ọ dụchakpoo nno; ẹhu nọdu eghulẹ iya-a eghu g'ooghu iya; ọ paliẹle-a ẹka g'ọ paliru iya.
26 Ọ bụruro ọha, nọro ụzenya ụzenya bẹ ọ paliru ẹkwa-ọhubama; mbụ ọ bụruro ndu nọ l'ẹka mgboko jeberu bẹ ọokporu okwe. Ẹphe shi l'ẹka ono ezi ta-
phutaphu agba abya. 27 Ọphu ọ dụdu g'ẹphe ha g'ọ ka
mma l'ọo onye lanụ, ike ọso bvụru; ọphu ọ dụdu onye ọphu mgbẹnya rweru; ọphu ọ dụdu onye mgbẹnya tụru; ọphu ọ dụdu onye ọphu akpọ, o keru l'upfu tọ-woru atọ-wo l'upfu; ọphu ọ dụdu onye ọphu eri akpọkpa iya

gbabuhuru. [28] Apfụ phẹ tụpyichaa zịnguzingu. Ụta phẹ
g'ẹphe ha gọkobechawaa rengurengu. Nzọkpa ịnya phẹ
nọdu egbunwutajẹchaa ọku. Ọkpa ụgbo-ịnya phẹ nọdu
ezichaa phaaphaaphaa g'oke phẹrephere. [29] Ọ́rà, ẹphe
ara dụ g'ẹka oduma asụ ekiri. Mbụ l'ẹphe agbọ ụja gẹ
nwada oduma; ẹphe nọdu asụ kọroro, anyapyashị ndu
dụwaa gẹ nri phẹ; apatajẹ phẹ rọ tụgbua; ọ tọ dụdu
onye agbaru phẹ mkpu.
[30] Mbọku ono bẹ ẹphe a-tụ ụzu kpua ya g'ẹka mini
agba gborogboro. Onye ọphu pazetaru ẹnya lee l'alị ono;
ọobuerupho iphe, ọo-hụma bụ ọchii yẹe mkpamẹhu;
mbụ l'ìphóró bẹ urwukpu e-mechaa l'ọ gbahụ ọchii.

# 6

*Ozi Azáya*

[1] L'apha eze, bụ Uzáya nwụhuru bẹ mu
hụmakwarupho Nnajịuphu l'ẹka ọ nọ l'aba-eze; ọ
nọdu ephekerephe; bya abụru onye e kutseru ekutse.
Tẹme igburọnu uwe iya tụko eze-ụlo Chileke ono l'ophu
sweta. [2] Ndu nọ iya l'eli bụru ụnwu-ojozi-imigwe,
bụ serafu; g'ẹphe ha fuchaa ǹkù ishii ishii. Ǹkù labọ bẹ
ẹphe egudeje kpuchia iphu phẹ; ẹphe egude ẹbo kpuchia
ọkpa phẹ; bya egude ẹbo ephe ephephe. [3] Ẹphe nọdu
epfugbaa anụ nwibe phẹ asụje:
“Nsọ! Nsọ! Nsọ! Chipfu,
bụ
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ
dụ nsọ!
Mgboko l'ophu bẹ akpabiri
iya jiru!”
[4] Ẹphe -pfua opfu ono; itso, gude eze-ụlo Chileke
l'ophu angakọta anganga. Ẹnwuru-ọku abya ejiẹpho ẹka
ono kẹ pyịmu!

5 Tọbudu iya bụ; mu sụ: “Nshịo mu! Ephuhu mu. Noo
kẹle mu bụ onye ọnu-ụrwu; tẹme mu buru l'echilabọ
ndu ọnu-ụrwu; tẹme mu bya egude ẹnya mu hụma onye
eze ono, bụ Chipfu ọphu bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike!”
6 Tọbudu iya bụ; onye lanụ l'ime serafu ono bya
ephepfuta mu. Ọ bụru iphe, o gude l'ẹka bụ icheku-ọku,
ọku dụ. Ọ bụru ákpà bẹ o gude kpàtá ọku ono l'ọru-
ngwẹja Chileke. 7 O woru icheku-ọku ono daa mu l'ọnu;
bya asụ mu: “Lenu; a daakwaru ngu ọku l'ọnu. Nta-a bẹ
e nwefuakwaru ngu ụta, shi dụru ngu nụ; tẹme a pfụwa
ụgwo iphe-ẹji ngu l'ophu.”
8 Noo teke mu nụmaru olu-opfu Nnajịuphu l'ẹka oopfu
sụ: “?Bụ onye bẹ mu e-zi ozi? ?Bụ onye e-jeru anyi ozi?”
Mu sụ: “Wakwa mu! Zia mu iya!”
9 Ọ sụ: “Ngwa; je akaru ndu-a; sụ phẹ lẹ-a: ‘Unu a-
nụma nụma nta nụma imo; ọle ọ tọ dụdu iphe, edo unu
ẹnya. Unu elee ẹnya nta lee imo; ọle ọ tọ dụdu iphe, unu
a-hụma.’ 10 Mee ndu-a g'ọkpoma nmaa phẹ agbadagba.
L'iimee gẹ nchị nyị phẹ ẹrwa. L'iimee g'ẹnya nyịhu
phẹ. Ọdumeka bẹ ẹphe e-gudekwa ẹnya phẹ hụma;
gude nchị phẹ nụma; gude ọkpoma phẹ nwụta iphe;
dakọbe bya l'eemee g'ẹphe wekọrohu.”
11 Mu bya ajịa sụ: “Jiko Chipfu; ?bụ teke ole bẹ ọo-
duberu nno?”
Ọ sụ: “Ọo-dụ nno jasụ mkpụkpu ono adabyiru bụru
ochobu. Ọ tọ dụedu onye e-buru iya nụ; jasụ ụlo
atụko bụru okorobo ụlo, adụdu onye bu iya nụ. Alị
emebyishihu bụru mkpọkoro alị. 12 Sụ-a; ọo-dụ nno jasụ
teke yẹbe Chipfu e-me g'onyemonye laa ẹka dụ ẹnya.
L'aaparu alị l'ophu tọgbo iphoro. 13 Sụ l'a makwarụ-
a l'oke-lanụ-l'ụzo-iri a-phọdu lẹ ndu alị ono. Ọle ọ
kwaphọ e -mechaa; ẹphe abụru mkpurupyata. Ọle ọ
bụ; ọo g'eegbutsuje oshi achị; ọzoo oshi akpụrata; upfu

iya akwaa l'alị-a; bụ g'oo-mecha nweru nwa ndu a-phọdu nụ l'ime oshilọkpa Ízurẹlu, bụ ndu a-dụru mụbe Chipfu nsọ."

# 7

*Ozi, Azáya ziru eze, b*ụ Éhazu

1 Teke Éhazu bụ eze ndu Jiuda; mbụ Éhazu ono, bụ nwa
Jiótamu; Jiótamu bụru nwa Uzáya; ọ bụru teke ono bẹ
Rezinu, bụ eze ndu Arámu; yẹle Peka nwa Remalaya, bụ
eze ndu Ízurẹlu wụ-lihuru je etsoo ndu Jierúsalẹmu ọgu;
ọphu ẹphe adụdu ike lwụ-kpee phẹ.
2 Tọbudu iya bụ; e pfuaru iya ndu ọnu-ụlo Dévidi sụ
phẹ: "Ndu Arámu bẹ ẹphe lẹ ndu Ifuremu jeakwaru
atụgba nanụ." Opfu ono mee; obu teahaa Éhazu yẹle
ndibe iya ophe; g'ẹka phẹrephere enwunga oshi, bvuru
l'ẹgbudu.
3 Noo ya; Chipfu bya asụ Azáya: Lụfu g'unu lẹ nwa
ngu, bụ Sheya-Jiashubu swịru jepfu Éhazu l'ishi mgba-
mini Okpuru-ụzo-imeli; mbụ l'ụzo ono, eeshije eje l'ẹgu
Ọsa-iphe ono. 4 Sụ iya: "Tọkwa ẹhu; dobekwa onwongu
doo; ọphu i tsụkwa ebvu. G'ọ tọ bụkwaru nwa icheku-
ọku labọ ono, anyịhu anyịhu ono l'e-me g'obu phefu ngu;
mbụ nwa hanyịhanyi, ẹphe aba; mbụ Rezinu; yẹle ndu
Arámu; waa kẹ nwatibe Remalaya; 5 kẹle ndu Arámu; yẹle
ndu Ifuremu; yẹle nwatibe Remalaya chịakwaru ẹjo idzu
g'ẹphe e-shi mebyishia ngu. Ẹphe sụru-a: 6 'G'anyi je
alwụta ndu Jiuda l'ọgu. G'anyi je atụkaa phẹ nanụnanu;
woru keeru onwanyi. Anyi eworu nwatibe Tabẹlu dobe
g'ọ bụru eze, l'ẹka ono.'
7 "O bekwanụ lẹ Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike sụru
l'ọ tọ byadụ anwụ nno! L'o too medu ememe ophu.
8 ?Tọbudu Damasụkosu bụ ishi mkpụkpu ndu Arámu;

onye bụ ishi ndu Damasụkosu bụru Rezinu? A -bya
anọo ụkporo apha ẹto l'apha ise bẹ ee-gwe ndu Ifuremu
arakabya; k'ọphu ẹphe ta asụeduru abụru ọha ẹka phẹ.
9 Sụ-a; ?tọ bụdu Samériya bụ ishi mkpụkpu ndu Ifuremu;
onye bụ ishi ndu Samériya bụru nwatibe Remalaya? Ị -
pfụduru pfụshia ike l'iphe, i kweru bẹ ii-mechakwaa; ị tịi
pfụduru apfụru ophu."

### *Iphe, abyabya* Ịmanelu egoshi

10 Chipfu gbẹshikwa ọzo bya asụ Éhazu-a: 11 "Pfuaru
Chipfu, bụ Chileke ngu g'o mee iphe-ọhubama goshi
ngu; m'obeta ọ -bụru l'ẹka dụ omilomi g'alị-maa; ọzoo
l'ephekerephe ẹka kachaa ephekerephe."

12 Éhazu sụkwanu: "Mu te epfukwa. Mu te ejekwa ahụ
Chipfu ama."

13 Noo ya bụ; Azáya sụ: "Unu ngabẹkwa nchị; unubẹ
ndu ọnu-ụlo Dévidi! ?Nemadzụ, unu anọduje egbur-
washị ẹhu ono teke asụduru unu? ?Unu eme g'unu
watafụa egburwashị Chileke mu ẹhu tọo? 14 Noo g'o
gude Nnajịuphu l'onwiya je l'eme iphe-ọhubama nụ unu.
Lẹ nwamgbọko yẹe nwoke teke akwaswee a-tsụta ime
nwụa nwa nwoke; tẹme l'ọ gụa ya 'Ịmanelu', bụ iya bụ
'Chileke nọ swiru anyi'. 15 Iphe, ọo-nọdu eri bụ manụ,
e meru l'ẹra-eswi; yẹe manụ-ẹnwu; mẹ ọ -maẹrupho
iphe ree k'ọphu ọo-jịkaje ẹjo-iphe hata iphe-ọma. 16 Ọle
o -betashịa teke nwata ono a-maru iphe ree k'ọphu ọo-
jịkaje ẹjo-iphe hata iphe-ọma; alị ndu eze labọ ono, ịitsu
ebvu ono a-bụkotawaru ochobu.

17 "Chipfu dobeakwaru teke unu eje iphe-ẹhuka; ndibe
unu ejee iphe-ẹhuka; ndu ọnu-ụlo nna unu phẹ ejek-
waphọ iphe-ẹhuka; mbụ ẹgube iphe-ẹhuka, adụdu ọ-
dụ-g'ọo-ya, dụjeru nụ; e -shi gẹ ndu Ifuremu shichaa lẹ

ndu Jiuda bukafu. Ndu oo-gude bya ọgu ono bụ eze ndu Asiriya.”

18 O -rwua teke ono bẹ Chipfu e-ku shịshishi phekuta ijiji, shirọ l'ọhu ẹnyimu Ijiputu bya ephekutakwaphọ ẹnwu, shi l'alị ndu Asiriya.
19 Ẹphe atụko bya akụru lẹ nkwagbo nkwagbo mkpọda-obvu; mẹ lẹ mgbaka mgbaka agbara-mkpuma; tụko ẹgbudu, obvu dụ sweta; bya atụko ọgba, mini adụje kujia.

20 O -rwua mbọku ono bẹ Nnajịuphu e-gude akịriko, ọ natarụ l'azụ ẹnyimu Yufurétisu; mbụ eze ndu Asiriya; gude kpụa unu ishi; kpụa unu ẹ́jí ọkpa; bya akpụkwapho unu ẹ́jí-agba.

21 O -rwua mbọku ono bẹ onye lanụ a-kụtaje nweswi yẹe eghu labọ dobe ndzụ.
22 Ọ bụru ẹra, a-nọdu agbọ iya jọjojo l'e-me g'onye ono nweru manụ, dụ shii, ọo-nọdu eri, bụ manụ ọphu e meru l'ẹra-eswi. Mbụ l'iphe, bụkpoo nwa g'ẹphe ha phọdu l'alị ono a-nọduepho eri manụ, e meru l'ẹra-eswi; yẹe manụ-ẹnwu.

23 O -rwua mbọku ono; iphe, bụkpoo ẹka e shi nweru ụnu vayịnu labọ lẹ vayịnu ụkporo iri, e shi eretajẹ ẹkpa-ego ise bụwaa iphe, a-dụ iya nụ bụ ọgara-mbo yẹe olekarara.
24 Iphe, nemadzụ e-gudeje eje iya a-bụru ụta yẹe apfụ; kẹle alị ono l'ophu bụ iphe, e-ji iya nụ bụ ọgara-mbo yẹe olekarara.
25 A -bya l'úbvú úbvú ono, bụ ẹka e shi egudeje ọgu akọ akọko; nemadzụ ta adụedu ike eye iya ishi; kẹle ọgara-mbo yẹe olekarara a-tụko iya sweta. L'ọ bụru ẹka eswi yẹe atụru a-nọdu awụ-phe.

# 8

*Ndu Asiriya* bụ ndu Chipfu gude eje ozi

1 Noo ya; Chipfu bya asụkwa mu phọ-a: "Wota ẹkwo,
eedeje iphe; ẹkwo, dụ ọsa dee iphe; gudekwa mkpara-
ẹkwo mmanụ dee ya. Iphe, ii-de iya bụ 'Maha-Shalalu-
Hashi-Bazu', bụ iya bụ 'Eme ẹgwegwa l'ọkwata; ezi
kororo l'iphe onye ọzo.' 2 L'i kua onye uke Chileke, bụ
Uráya; yẹle Zekaraya nwa Jieberekaya, bụ phẹ bụ ndu e
gude ire phẹ ẹka g'ẹphe bụru ndu ekebe."
3 Noo ya; mu bya ejepfu nyee mu. Ọ tsụta ime
nwụa nwa nwoke. Chipfu bya asụ mu: "Iphe, ị̣i-gụ
nwata ono bụkwa 'Maha-Shalalu-Hashi-Bazu.' 4 Kẹle-a;
nwata ono -bya amaru eku 'nnana' yẹe 'nene' bẹ eze ndu
Asiriya byakwaru bya achịtakota ẹku ndu Damasụkosu
yẹe iphemiphe, ndu Samériya nweru."
5 Chipfu byakwa bya epfuru yeru mu ọzo sụ: 6 "Eshinu
ndu-a jịkaru mini ono, asọ nwa rima ono; mbụ mini
Shilowa; bya etechiaru ẹswa kpua eze Rezinu yẹe nwatibe
Remalaya 7 bẹ Chipfu abyakwa agbapyabẹ phẹ l'eze utso,
e-shi l'ẹnyimu Yufurétisu. Utso ono bụ eze ndu Asiriya;
yẹe akpabiri iya l'ophu. Utso ono a-tụko ọgba iya l'ophu
gbafushihu; bya atụko ọma iya sweta; 8 sọru gborogboro
sọba l'alị ndu Jiuda; awụ̀chaa ya awụ̀wù; bya awọchaaru
iya l'ẹkpiri. Ǹkù iya, ọ tụsaru atụsa atụko uswekete alị
ngu ono gbarwee; gụbe Ịmanelu!"
9 Unu chia mkpu ọgu; unubẹ ọhamoha! G'a
chịkashikwaa unu achịkashi! Unu ngabẹkwa nchị; unubẹ
ndu bu l'ẹka dụ ẹnya! Unu dzukọbekwa k'ọgu; ọle aa-
chịkashikwanu unu achịkashi. Sụ-a; unu dzukọbe k'ọgu;
ọle aa-chịkashikwanu unu achịkashi. 10 Unu chịkpoo idzu
g'unu e-me iphe! Ọle aa-gbaghashịle iya-a. Unu pfua
g'unu e-me iya! Ọle ọ tọo dụdu g'unu pfuru iya. Noo
kẹle Chileke nọ swiru anyi!

*Atsụ* Chileke ebvu

11 Chipfu bya ebyibe mu mkparawa ẹka iya ono bya
epfuru yeru mu; lọo mu ẹka lẹ nchị sụ mu gẹ mu te
etsokwa ndu-a. Ọ sụ mu-a: 12 "Iphe, ndu-a sụru l'ọ
bụ achị ẹjo idzu; unu b'ekwekwa l'ọ bụ achị ẹjo idzu!
Iphe, ẹphe atsụ ebvu; unu ta atsụkwa iya ebvu; ọphu
unu ejekwaru iya aphụru kparịkpari! 13 Ọo Chipfu, bụ
Ọkalibe-Kakọta-Ike bụ onye unu e-kweje l'ọ dụ nsọ.
Ọ bụru iya bụ onye unu a-tsụje ebvu; bụru iya bụ
onye unu a-nọduje aphụ kparịkpari l'iphu iya. 14 Tẹme
ọ bụru iya a-bụru ẹka e doberu nsọ. Teke a byaru
l'ẹka ọnu-ụlo Ízurẹlu ono nọ; ẹphenebo bẹ ọo-bụru
mkpuma, ee-vukotajẹ daa iko bya abụkwarupho agbara
mkpuma, e-meje g'ẹphe daa iko. A -byakwanụ l'ẹhu kẹ
ndu Jierúsalẹmu l'ọ bụru igbudu yẹe ọ́nyà, a gbaberu
phẹ. 15 Ẹphe a-dụ igwerigwe kpọo ya ọkpa. Ẹphe adaa
tsukwoshihu; l'a nmakọkwaa phẹ phọ l'ọ́nyà; kpụa phẹ
lẹ ndzụ."
16 Iphe-a, mu epfu g'e meje-a bẹ ee-woru kechia ekechi;
l'e woru ekemu ono suchia g'ọ kwaaru ndu etsoje mu nụ.
17 Mbẹdua a-nọdu kwabẹru Chipfu; mbụ onye ono, woru
iphu iya wohaaru ọnu-ụlo Jiékọpu ono. Ọ bụru iya bẹ
mu e-le ẹnya iya.
18 Wakwa mu baa; mu l'ụnwegirima ono, Chipfu nụru
mu ono. Anyi bụkwa iphe, egoshi iphe; bya abụru iphe-
ọhubama, dụru ndu Ízurẹlu; mbụ iphe, shi l'ẹka Chipfu,
bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike; bya abụru Chipfu, bu ebubu
l'úbvú Zayọnu.
19 Ndiphe asụje ngu g'i je l'ajị l'ibe ndu aphụ
ọphulenya mẹ ndu emeje ọmamanshi; ndu bụ
okpurọswa bẹ ẹphe aphụje; tẹme ẹphe nọdu anọduje
epfu l'ime ọnu l'ime ọnu; ? bụchia Chileke bẹ e te
ejechidaa ajịta iphe? ? Dẹnu g'o gude ọ bụru onye
nwụhuru anwụhu bẹ ndu dzụ ndzụ ejejechia ajị iphe?

[20] Tụbe nvọ l'ekemu; yẹle iphe, mu karụ g'e meje.
Ọ -bụru l'ẹphe te epfudu akụnyabe opfu ono; ọo ya bụ
l'ẹphe taa ahụmadu ìphóró nchi-abọhu.
[21] Aphụ a-tsụru phẹ; ẹgu emeshia phẹ ike; l'ẹka ẹphe
tsoru alị ẹka ono aghaphe bọtorii. Teke m̀bà tụeru phẹ
phọ; ẹhu agbangahụ phẹ. Ẹphe apalia ẹnya imeli wata
ephu onye eze phẹ iphu; yẹle Chileke phẹ. [22] Ẹphe
abyakwa apazeta ẹnya lee lẹ mgboko. Iphe, ẹphe a-
hụma abụerupho aphụ yẹe ọchii, l'a-nọdu agba nụ yẹe
ragaraga iphe, a-nọdu eye phẹ ebvu. L'e woru phẹ chie
l'ẹka gbakọtaru tsụkiribaa.

# 9

[1] Ọle g'ọ dụhabe; e -mechaa bẹ ọ tọ dụedu iphe, adụ
ragaraga l'ẹnya ndu nọ l'iphe-ẹhuka. Teke k'ichee bẹ ọ
tọ dụdu iphe, a gụberu alị ndu Zebulọnu yẹe alị ndu
Nafụtali. Obenu l'o -be l'iphu bẹ aa-kwabẹ ndu bu eze-
ẹnyimu ntse ùbvù; mbụ ndu bu l'azụ ẹnyimu Jiọ́danu
azụ iya ọphuu, bụ iya bụ alị Gálili, bụ ẹka ono, ndu
ọhozo bu ono.

*A nw*ụru anyi nwaswa

[2] Sụ-a; ndu nọ l'ime ọchii
hụmaakwaru ìphóró,
parụ ẹka.
Ndu k'ono, bu l'alị ono,
gbakọtaru tsụkiribaa ono
bẹ ìphóró nwuakwarụ
kẹ phorokotokongu.
[3] Ọha ono bẹ i mewaru;
ọ ka shii; bya emee;
ẹhu ka phẹ atsọ ụtso.
Ẹphe nọdu anọduje l'iphu
ngu ete ẹswa gẹ ndu

ete ẹswa ekpu iphe,
ẹphe metaru l'opfu,
ẹphe kọru;
gẹ ndu ete ẹswa l'ẹka
ẹphe eke iphe,
ẹphe kwatarụ l'ọkwata.
4 L'ọ bụ-a g'i meru teke
i mekperu ndu
Midiyanu teke ndiche
phọ bụ g'ị chịkashiru ivu-ẹrwa,
shi nyịpyabe ndibe ngu;
bya anyakashịa mgbọrígwè,
e shi swebe phẹ l'ukuvu;
yẹe oshi,
ndu emekpa phẹ ẹhu shi
gude echi phẹ ẹchachi.
5 Akpọkpa ndu ojọgu g'ọ ha,
e gude lwụa ọgu;
mẹkpoo iphe, bụ uwe,
a rwaphuru lẹ mee bẹ bụ
iphe,
e doberu k'akpọ ọku;
mbụ l'ọo-dụ gẹ nkụ,
e gude aphụ-nwu ọku;
6 kẹle a nwụru anyi nwaswa;
mbụ l'a nụru anyi nwa
nwoke.
Ọ bụru iya bụ onye a-bụru
onye-ishi.
Iphe, aa-nọdu eku iya bụ
“Onye mkpozi-ụzo,
dụ biribiri”;
yẹe “Chileke,

bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike”;
waa “Nna-ojejoje”;
waa “Onye-ishi,
eme gẹ nchị dụ doo”.
7 Abụbu, ọo-bụru onye-ishi;
yẹe nchị-odoo,
e-shi iya l'ẹka a-nọdu aka
shii eje ala l'iphu;
tẹme ọphu ọ byadu
abvụ abvụbvu.
Ọo-nọdu l'aba-eze
ochochoroche iya,
bụ Dévidi bụru eze.
Oo-gude ekpe ikpe, pfụru ọto;
waa apfụbekoto mee ya
g'o keru jịngujingu;
mbụ mee ya g'ọ ngụru
angụru e -shi lẹ teke ono
jasụ l'ojejoje.
Ọ bụru g'ọ phụ-tabe Chipfu,
bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike
l'ẹhu l'e-me g'o mee ya.

*Ndu Ízur*ẹlu akpatsu Chipfu ẹhu-eghu

8 Nnajịuphu pfuwaru iphe, ya e-me oshilọkpa Jiékọpu.
Iphe ono tukoru ndu Ízurẹlu l'ishi; 9 k'ọphu bụ lẹ
ndu Ízurẹlu l'ophu a-makọtaru iya; mbụ ndu Ifuremu;
mẹkpoo ndu bukọta lẹ mkpụkpu Samériya; ndu egudeje
eku onwophẹ yẹe etsetse, shi phẹ l'ọkpoma sụ: 10 “Ụlo
ono, e gude ẹja kpụa ono bẹ dakpọshihuakwaru nụ. Ọle
anyi a-pyịkwanu mkpuma kpụkwaa ya. Oshi sịkamo ono
bẹ e gbutsuakwaru. Ọle anyi e-wokwanụru oshi sida je
adzakwaa l'ọzo iya.”

11 Ọle Chipfu byaru eyeeru ndu ọhogu Rezinu
ọkpukpu-ike g'ẹphe je etsoo phẹ ọgu; mbụ lẹ ndu
ọhogu phẹ bẹ ọ tụgbawaru nanụ doberu phẹ. 12 Ndu
Arámu shiakwa l'ụzo ẹnyanwu-awawa. Ndu Filisitayinu
shi l'ụzo ẹnyanwu-arịba saa ọnu gabala bya eworu ndu
Ízurẹlu lwụa. Ọle iphemiphe ono mechaarụ; ẹhu nọdu
eghuẹle-a Chileke eghu. Ọ paliẹle-a ẹka g'ọ paliru iya.

13 Ọle ndu Ízurẹlu ta adakọbeduru lwapfuta onye ono,
chiru phẹ iphe ono; mbụ l'ẹphe ta achọduru Chipfu ono,
bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike ono. 14 Ọo ya bụ lẹ Chipfu e-bufu
ndu Ízurẹlu ishi bufu phẹ ọdzu; sàshịa igu; pheshia ẹswa
l'akpụru ẹnyanwu lanụ. 15 Ọ bụru ndu bụ ọgerenya;
yẹe ndu nweru ẹnya bụ phẹ bụ ishi ọbu. Ọ bụru
ndu mpfuchiru Chileke, bụ ndu ezi iphe, abụdu ire-lanụ
bụ mgbọdzu. 16 Ndu edu ndu Ízurẹlu eduswekwa phẹ
eduswe; tẹme ẹphebedua, eedu ụzo ọbu bụru ndu e
duphuru ụzo. 17 Ọo ya bụ lẹ ndu bụ okorọbya l'alị
ono te emedu g'ẹhu tsọo Nnajịuphu ụtso. Ndu enwedu
nna yẹe ụnwanyi, ji phẹ nwụhuru bẹ ọ tọo phụduru
obu-imemini. Noo kẹle onyemonye te emedu ele Chileke;
tẹme onyemonye bụwaru onye ẹjo-iphe; bya egudewaa
ọnu epfu mkpọkoro opfu. Ọle iphemiphe ono mechaarụ;
ẹhu nọdu eghuẹle-a Chileke eghu. Ọ paliẹle-a ẹka g'ọ
paliru iya.

18 Ẹjo-iphe, ẹphe eme enwu phuruphuru g'ọku. Ootsu
ọgara-mbo etsu olekarara. Tẹme ọ tụko ẹpfukala, nọ
l'ọswa l'ophu eze wọowoowoo; k'ọphu bụ l'ire-ọku iya
zelihuru tsoru ẹnwuru-ọku iya ala l'eli l'eli. 19 Oke ẹhu-
eghu Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike bẹ a-nma alị ono
l'ophu swọkoswoko. Ọ bụru ndu Ízurẹlu a-bụru manụ-
ọku, aa-nọdu ekpu l'ọku ono g'o gude bulihu ebulihu.
Ọphu ọ dụdu onye aphụjeru nwune iya obu-imemini.

[20] Ẹphe e-gbu l'ẹkutara ria; ẹgu agụle phẹ-a. Ẹphe eria
k'ẹkicha; o too jikwa phẹ phọ. Onyemonye a-taahaa anụ
onye yẹe ya bụ. [21] Mbụ lẹ ndu Manásẹ a-taahaa anụ
ndu Ifuremu. Ndu Ifuremu ata kẹ ndu Manásẹ. Ẹphe
atụko gha iphu tsoahaa ndu Jiuda ọgu. Ọle iphemiphe
ono mechaarụ; ẹhu nọdu eghuẹle-a Chileke eghu. Ọ
paliẹle-a ẹka g'ọ paliru iya.

# 10

[1] Nshịo ndu ono, anọduje atụ ekemu, apfụduru-ọto;
mbụ ndu asụje g'e mee iphe, egbupyata anụ; [2] k'ọphu
a taa hadụru ndu ụkpa enge; yẹe k'ọphu ẹphe a-nafụ
ndibe Chileke, bụ ndu eemekpa ẹhu iphe, rwuberu phẹ
nụ. Ndu woru ndu ji phẹ anọedu dobe nri eriri. Tẹme
ẹphe nọdu ana ndu enwedu nna nfụ. [3] ?Bụ gụnu bẹ
unu e-me mbọku Chileke abya unu agbaphe; mbụ mbọku,
mkpurupyata e-shi ụzenya bya? ?Bụ onye bẹ unu a-
gbapfu g'ọ dzọo unu? ?Bụ awe bẹ unu a-ha ẹku unu?
[4] Ọ tọ dụkwa iphe, aphọdu nụ; gbahaa g'ẹphe kpụa
unu lẹ ndzụ; lọo unu wuruwuru l'alị; ọzoo ẹphe egbua
unu egbugbu. Ọle iphemiphe ono mechaarụ; ẹhu nọdu
eghulẹ-a Chileke eghu. Ọ paliẹle-a ẹka g'ọ paliru iya.

### *Ikpe, Chileke e-kpe ndu Asiriya*

[5] "Nshịo gụbe Asiriya; mbụ gụbe ọha ono, bụ ngu bụ
oshi-mpalẹka, mu egudeje egoshi ẹhu-eghu mu. Tẹme
ọ bụru l'ẹka ngu bẹ mgbọro oke ẹhu-eghu mu ono nọ
gẹdegede. [6] Mu a-chịru Asiriya yeru ọha, amadụ mụbe
Chileke. Mbụ lẹ mu e-woru iya nwuaru ọha, akpatsuje
mu ẹhu-eghu; g'ẹphe kwaa ya ọkwata kee iphe phẹ l'ọha.
Ẹphe azọo phẹ tọlitoli g'onye azọka ẹpuchi lẹ gbororo."
[7] Obenu l'ọ tọ bụdu iphe ono dụ yẹbedua l'obu. Ọ
tọ bụduro iphe ono bụ iphe, ọori. Iphe, bụ uche iya bụ
emebyishi iphe emebyishi; g'o mee g'ọha, dụ igwerigwe

chịhu. 8 Ọ -nọdu l'ootu onwiya ẹpha sụ: “?Ọ kwa lẹ
ndu-ishi ojọgu mu bụkota eze eze? 9 Mkpụkpu Kaluno
?tọ bụdu gẹ mkpụkpu Kakemishi dụ bụ g'ọ dụ? Ọ
bụru gẹ mu meru mkpụkpu Hamatu bụ gẹ mu meru
mkpụkpu Apadu; bụru gẹ mu meru mkpụkpu Samériya
bụ gẹ mu meru mkpụkpu Damasụkosu. 10 Eshinu ẹka
mu dụru ike gudechaa alị-eze ndu agwọ ọbvu; mbụ alị-
eze ọphu nshi phẹ ka kẹ Jierúsalẹmu yẹe Samériya shii;
11 ?bụchia Jierúsalẹmu yẹe nshi nshi, dụ iya nụ bẹ mu
ta anụdu aphụ ẹgube ono, mu nụru ndu Samériya yẹe
iphe, ẹphe agwa ono?”

12 Nnajịuphu -meghechaẹpho iphe, oome l'ẹhu úbvú
Zayọnu yẹe Jierúsalẹmu bẹ oo-pfu sụ: “Mu a-hụ̀ eze ndu
Asiriya ahụ̀hù; kẹle o lekeberu ẹnya gude obu iya eku
onwiya; bya egude ẹnya etse etsetse.

13 “Noo kẹle ọ sụru: ‘Ọo ike ọkpu nkemu bẹ mu gude
mee iphe-a, mu meru-a. Ọ bụru mmamiphe mu bẹ mu
gude mee ya; opfu l'iphe edoje mu ẹnya. Oke-alị ụnwu-
eliphe bẹ mu meru ọphu oke adụedu l'ẹka o shi dụ. Mu
kwaa ẹku phẹ l'ọkwata; bya emekpee ndu eze phẹ kẹle
mu gbaru mkparawa. 14 Ọo g'aachịtaje ẹpfune ẹnu-a
bụ gẹ mu tụfuru ẹka chịta ẹku ọhamoha. Ọ bụru gẹ
nemadzụ achịkoje ẹkwa-iphe, a gbagharu agbagharụ-a
bụ gẹ mu chịkoberu ndu alị, shi ẹkameka l'ophu. Ọphu
ọ dụdu g'ọ ka mma l'ọo ndu alị ẹka lanụ chiru ǹkù kpaa;
ọzokwanu jaa ọnu too; ọzoo raa pfụrii.’ ”

15 Obenu lẹ Chipfu sụru-a: “Ogbunkụ; ?oo-ku onwiya
kughata onye gude iya egbu iphe tọo? Tọo mma, egudeje
ekwobu oshi ?ọo-wata ekuru onye gude iya nụ onwiya?
G'ọ bụ lẹ mgbọrígwè a-dụ ike ngalia onye apalije iya nụ;
ọzokwanu g'oshi-mpalẹka wata etu onwiya ẹpha sụ lẹ ya
ta abụekwa oshi.”

16 Ọo ya bụ lẹ Nnajịuphu; mbụ Chipfu, bụ Ọkalibe-
Kakọta-Ike l'a-chịru ẹjo iphe-ememe yeru ndu ojọgu
iya ono, gbaru mkparawa ono. Ọ bụru l'ime ẹhu
phẹ bẹ oo-mecha phụ-nwua o-nwu-phuruphuru ọku.
17 Ìphóró ndu Ízurẹlu a-bụru ọku; mbụ l'onye nsọ kẹ
ndu Ízurẹlu a-bụru ọku, enwu enwunwu. Ọ bụru eswe
ujiku lanụ bẹ oo-nwu phoophoophoo kekọta ọgarambo;
yẹe ọbyambvu, dụkota iya nụ. 18 Ẹguru ono, ọswa iya
dụ ono; yẹe alị phẹ ono, dụ ree ntụmatu ono bẹ oo-
mecha mebyishichaa l'ọ laa pyẹtee g'onye iphe eme;
19 k'ọphu bụ l'oshi, a-phọdu l'oke ọswa iya ono a-dụ
olemole shingushingu kpọ; k'ọphu nwatanshịi e-dekọta
iya l'ẹkwo.

20 O -rwua teke ono bẹ nwa ndu phọduru nụ l'ime
ndu Ízurẹlu; mbụ nwa ndu ọphu wafụru nụ l'ọnu-
ụlo Jiékọpu ta akpọedu obu eyeru ndu ono, echije phẹ
pyaapyaa ono. Ọ bụru onye ẹphe a-kpọru obu yeru
ọkpobe eyeru a-bụru Chipfu; mbụ Onye nsọ kẹ ndu
Ízurẹlu. 21 Nwandu ono, phọduru nụ ono e-mechaa lwa;
mbụ lẹ nwa ndu a-phọdu l'ọnu-ụlo Jiékọpu e-mechaa
lwa lwapfuta Ọkalibe-Kakọta-Ike ono, bụ Chileke. 22 Sụ-
a; mbụ l'a makwarụ-a l'unubẹ Ízurẹlu ha g'ẹja, dụ
l'agụga ẹnyimu. Ọle ọ bụ-a nwụphodu nemadzụ e-
mechaa lwa. Ọla-l'iswi phẹ bẹ a tubuwarụ l'onoo
g'ọo-dụ. G'oo-me iya ono a-bụru l'orwuberu iya. 23 Ọ
bụru Nnajịuphu; mbụ Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike l'e-
gude ẹka iya mebyishia ọhamoha ọbu l'ophu, bụ iphe, a
tubuwarụ l'oo-me phẹ.

*Aph*ụ, Chipfu a-nụ ndu Asiriya

24 Ọo ya bụ lẹ-a; wakwa iphe, Nnajịuphu, bụ Chipfu
ọphu bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike eepfu baa: "Unubẹ ụnwu
mu, bụ ndu bu l'úbvú Zayọnu; unu ta tsụkwa ndu Asiriya

ebvu; mbụ ndu ono, anọduje echi unu oshi-mpalẹka
ono. Tẹme ẹphe nọdu apalije mgbọro echi unu gẹ ndu
Ijiputu shi echije iya unu-a. 25 Ọ tọ dụkwa g'ọo-nọ-beru;
ẹhu eghubuhu mu eghu l'opfu ẹhu unu. Mu eworu oke
ẹhu-eghu mu ghaaru ẹphebedua woru phẹ mebyishia.”
26 Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike l'e-gude ẹchachi chia
phẹ gbaagbaa ẹgube ono, o chiru iya ndu Midiyanu lẹ
mkpuma Orẹbu. Mgbọro iya bẹ ọo-palikwaphọ maaru
mini ẹgube ono, o meru iya l'alị ndu Ijiputu ono. 27 Lẹ
mbọku ono bẹ ee-zi unu ivu ẹhu phẹ g'ọ tọ tukoru unu
l'ukuvu. L'a nyafụ iya unu g'ọ tọ tụkuehe unu l'olu. Iphe
ono, e gude kegbabẹ unu ono agbabuhu kẹle unu pawaru
okporokpo.

### *Ndu Asiriya abya* ọgu

28 Ndu ọhogu ono bahụwaru mkpụkpu Ayatu shita
je aghabua mkpụkpu Mịguronu. Ọ bụru ẹka ẹphe
jeru je akụbe iphe phẹ bụ lẹ mkpụkpu Mikumashi.
29 Ẹphe gbaa gorogoro nyịghatakota mgbaka mgbaka
úbvú epfuje sụ: “Ẹka anyi a-kwa bụkwa lẹ mkpụkpu
Geba.” Ndu mkpụkpu Rama wata anma pyaapyaapyaa.
Ndu mkpụkpu Gibiya, bụ ẹka Sọlu shi buru; ye ọkpa
l'ọso gbala. 30 Unu chia mkpu; unubẹ ndu mkpụkpu
Galimu! Unu ngabẹkpodapho nchị; unubẹ ndu mkpụkpu
Layisha! Unu kaa; unubẹ ndu mkpụkpu Anatọtu! 31 Ndu
mkpụkpu Madumena bẹ agbawaa ọso. Ndu mkpụkpu
Gebimu nọdu edomishiwaa onwophẹ. 32 Ọ bụru mbọku
ono bẹ ẹphe e-jeta je agbụru lẹ mkpụkpu Nobu. Ẹphe
egbu ẹka swịkiswiki l'iphu úbvú Zayọnu ono; mbụ l'eli
úbvú Jierúsalẹmu.

33 Lewarọ; Nnajịụphu; mbụ Chipfu, bụ Ọkalibe-
Kakọta-Ike e-gude ọkpehu, parụ ẹka kwafụ ẹkali-oshi

ono. Ee-gbutsu oshi ono ndu ọphu dụje phengara phen-
gara; mbụ mee; ndu ọphu dụ ogologo alwazeta alị.
34 L'o
gude ogbunkụ gbukaa ẹpfukala k'eze ọswa ono. Ọo ya bụ
l'ọswa ono, nọ l'úbvú úbvú Lébanọnu ono l'adaa l'iphu
onye ono, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike ono.

# 11

Ẹkali Jiesi

1 Mkpirikpu upfu-oshi ono,
bụ Jiesi l'e-rwuta irwu.
Ọ bụru l'ọgbarabvu iya bẹ
ẹkali e-shi nyịkata.
2 Unme kẹ Chipfu a-nọdu iya
l'ẹhu; mbụ Unme,
emeje g'a maru iphe;
bya abụkwarupho Unme,
emeje g'iphe doo ẹnya;
Unme mgbazi;
bya abụkwarupho Unme,
emeje g'ike dụ;
Unme, emeje g'a nwụta iphe;
bya abụkwarupho Unme,
emeje g'a tsụ Chipfu ebvu.
3 Ọ bụru iphe, a-dụje iya ree
bụ g'a tsụje Chipfu ebvu.
Ọ tọ bụkwa iphe,
o gude ẹnya hụma bẹ
oo-gudeje ekpe ikpe;
ọphu ọ bụkwa iphe,
ọ nụmaru lẹ nchị bẹ
oo-gudeje kpebua iphe,
dụ k'ekpebu.
4 Ọ chia iphe, meru nụ bụ

l'oo-kpeje ndu adụdu
g'ọ dụ phẹ ikpe, pfụru ọto.
Ọ bụru ikpe,
pfụru nhamụnha bẹ
oo-gudeje kpebua ikpe
ndu ụkpa l'eliphe-a.
Eliphe l'ophu bẹ oo-gude
mgbọro,
dụ iya l'ọnu chia gbaagbaa.
Ọ bụru unme,
ọ tụru atụtu bẹ oo-gude
phụa ndu ẹjo-iphe tẹerii.
5 Apfụbekoto a-bụru iphe,
oo-ke l'upfu.
Apfụshi ike, l'iphe,
o pfuru abụru iphe,
ọo-tubutajẹ uwe iya l'upfu.
6 Ẹjo-nkụta-ọswa bẹ oo-me;
yẹe ụnwu atụru akpaahaa
ẹghirigha.
Agụ yẹe eghu adọaha l'ẹka
lanụ.
Nweswi; mẹ nwoduma;
mẹkpoo anụ,
atsụje onwiya ẹbà a-tụko
akpa ẹghirigha.
Ọ bụru nwatanshịi bẹ
a-nọduje eche phẹ nụ.
7 Ne-eswi; yẹe ẹjo anụ-ẹgbudu,
bụ bịye a-nọdu ata nri
ẹghirigha.
Ụnwu phẹ atụko adọ l'ẹka lanụ.
Tẹme oduma abụru anụ,

a-nọdu ata ẹswa g'oke-eswi.
8 Nwa, angụ ẹra a-nọduje
l'ọnu ẹnu óghù ebvu ebvu.
Nwatanshịi, a mịfuwaru ọnu
l'ẹra ewojeru ẹka ye
l'ẹnu ogiji.
9 Iphemiphe ono ta adụdu
ọphu emeka nemadzụ iphe;
ọphu ọ bụro k'emegbu l'úbvú,
e doberu mu nsọ l'ophu;
kẹle ọo gẹ mini do-jiru
ọma ẹnyimu-a bụ g'eliphe
l'ophu a-madzuru Chipfu.

### *Alwalwa ndu a kp*ụru lẹ ndzụ

10 O -rwua teke ono bẹ ọgbarabvu Jiesi ono a-bụru
ẹkwa-ọhubama k'ụnwu-eliphe. Ọ bụru iya bẹ ọhamoha
a-nọduje agba agbapfu; ọkpoku iya a-dụ akpabiri l'ẹnya.
11 Mbụ l'o -rwua mbọku ono bẹ Nnajịuphu a-machị ẹka
iya ọzo k'ugbo ẹbo nafụtafuchaa nwandibe iya ndu ọphu
a-phọdu l'alị ndu Asiriya; mẹ l'alị ndu Ijiputu; mẹ l'alị
Paturọsu; mẹ ndu ọphu e-shi l'alị ndu Kushi; mẹ ndu
ọphu e-shi l'alị ndu Elamu; mẹ ndu ọphu e-shi l'alị
Shịna; mẹ ndu ọphu e-shi lẹ mkpụkpu Hamatu; mẹ
ndu ọphu e-shigba l'ọha, bukube eze-ẹnyimu. 12 Ẹkwa-
ọhubama bẹ ọo-paliru ọhamoha; bya atụko ndu Ízurẹlu,
a kpụru lẹ ndzụ chịtachaa; l'o rwukọbe ndu Jiuda ono,
a tụkaru nanụnanu ono. Ẹka oo-shi rwukọbe phẹ bụ lẹ
nkulahụ eliphe ụzo ẹno ono. 13 Okophoo ndu Ifuremu
e-phukashịhu; l'e mee gẹ ndu ọhogu ndu Jiuda chịhu.
Mbụ lẹ ndu Ifuremu te ekoẹduru ndu Jiuda okophoo;
ọphu ndu Jiuda adụeduru ndu Ifuremu ẹhuka. 14 Ẹphe
e-zi phaa je ndu Filisitayinu bu l'ụzo ẹnyanwu-arịba

swọkoswoko. Ẹphe abyakwaphọ erwukọbe onwophẹ
je akwagwoo ndu bu l'ụzo ẹnyanwu-awawa. Ẹphe a-
zụ ndu Edọmu yẹe ndu Mówabu gburumu. Ẹphe emee
ndu Amọnu ẹphe anọdu phẹ l'ẹka. 15 Chipfu l'e-me
g'ọ tahụ; mbụ nkulahụ eze-ẹnyimu Ijiputu. Ọ bụru
phẹrephere, ekpo pharaphara bẹ oo-zi gude phee ẹka
l'eli eze nggele Yufurétisu. Oo-me iya l'ọ ta-bushihu
atabushihu; tabuha uzi ẹsaa; k'ọphu nemadzụ a-zọje
gẹdengu gẹdengu gẹdengu ghata iya. 16 Nwandibe iya
ndu ọphu phọduru nụ, e-shi l'alị ndu Asiriya alwa bẹ aa-
tọgboru oji, a-dabyiru kẹ phorokotokongu; ẹgube ono,
a tọgboru iya ndu Ízurẹlu teke ono, ẹphe shi l'alị ndu
Ijiputu alwa ono.

# 12

*Ebvu ekele*

1 Sụ-a; mbọku ono bẹ
ịi-sụ:
“Mu e-kele ngu ekele gụbe
Chipfu; kẹle mu shi mee;
ẹhu nọdu eghu ngu eghu.
Ọle nta-a bẹ ẹhu-eghu ngu
jizetawaru;
ị bya awata mu adụ obu.
2 Lenu; ọ kwa Chileke bụ
onye ndzọta mu.
Mu a-kpọru obu ye l'ẹka ọ nọ;
ọphu ndzụ agụdu mu;
kẹle Nnajịuphu,
bụ Chipfu ono bụ ọkpehu
mu bya abụru iya bụ
olu ebvu mu.
Tẹme ọ bya nta-a bya abụru

onye dzọru mu nụ.
3 Ọ kwa ẹhu-ụtso bẹ ii-gude seta
mini lẹ wẹlu ndzọta."
4 Noo mbọku, ịi-wata epfu sụ:
"Unu kele Chipfu ekele;
unu raku ẹpha iya!
Unu mee g'ọhamoha
madzuru iphe-ọma,
o meru!
Raa ya arara l'ẹpha iya parụ
ẹka!
5 Gụ-ku Chipfu ebvu ekele;
kẹle iphe-ọma,
o megbabẹru nyịberu
anyịbe.
Unu mekwaphọ gẹ mgboko
l'ophu madzuru iphe ono,
o megbabẹru ono!
6 Unubẹ ọha,
bu l'úbvú Zayọnu;
unu tụa ụzu ẹhu-ụtso;
kẹle onye ono,
nọ l'echilabọ unu ono
parụ ẹka;
mbụ Onye Nsọ kẹ
ndu Ízurẹlu."

# 13

*Epfu opfu* ẹhu ndu Bábilọnu

1 Ọwaa bụ ozi, Chileke ziru zidoru ndu Bábilọnu. Ọ
bụru onye o ziru iya bụ Azáya nwa Emọzu.
2 "Palia ẹkwa-ọhubama l'eli úbvú, dabyiru swachamu.
Nọdu l'ẹka ono chiaru phẹ mkpu. Pheeru phẹ ẹka

g'ẹphe shia ọnu-ụzo bahụ l'ẹka ndu a maru ẹpha phẹ
nọ. 3 Mbẹdua, bụ Chipfu tụwaru ekemu nụ ndibe mu, bụ
ndu mu doru nsọ; bya achịkobekwapho ndibe mu, bụ ndu
ọkpehu dụ g'ẹphe je egoshi l'ẹhu eghu mu eghu; mbụ
ndu ẹhu anọduje atsọ lẹ mu parụ ẹka.”

4 Nụmakpodapho ụzu, aatụ l'eli úbvú; g'ikpoto ndu
parụ ẹka apaa. Nụmakpodapho wọowoowoo, ọhamoha
atụ; g'ọha, eme ndzukọ. Ọ kwa Chipfu, bụ Ọkalibe-
Kakọta-Ike achịkobe ndu a-lwụru iya ọgu. 5 Ndu ono shi
ẹka dụ ẹnya; ẹphe shi l'ẹka igwe jeberu. Ọ bụru Chipfu;
yẹle ndu bụ ngwọgu, o gude egoshi l'ẹhu eghu iya eghu
bẹ l'eme g'ọ bya emebyishikota ndu alị-a l'ophu.

6 Unu kwaa idemini ẹkwa; kẹle eswe Chipfu dụwaa
ntse! Mbọku ono a-bụru eswe ala iphe l'iswi. Ọ bụru
l'ẹka onye oo-shi bụ Ọkalibe-kangokọtaru-nụ. 7 Ọo ya
bụ l'ẹka onyemonye a-tụlwahu. Obu eterwuhu onye-
monye. 8 Ẹphe atsụhu ebvu; ẹhu aphụhu phẹ ụphu;
l'ọoburu iphe-ẹhuka byaru phẹ gẹ nwanyị, ime eme.
Onyemonye adụ nwibe iya akpabiri. Ẹphe agbanwụbe
iphu ẹhuka ẹhuka. 9 Lekwa lẹ mbọku kẹ Chipfu
abyaakwaa. Mbọku ono a-bụru eswe omeliwe; bya abụru
mbọku oke ẹhu-eghu. Noo mbọku, ee-me gẹ mgboko
l'ophu bụru ochobu. L'aa-tụko ndu iphe-ẹji, nọ iya nụ
mebyishia. 10 Mbọku ono bẹ kpokpode, nọ l'igwe g'ọ ha
te ekekwa paapaapa. Ẹnyanwu ekeru l'ẹka ọowataje wata
agba ọchii. Ọphu ọnwa echidu ilile.

11 Chipfu sụru-a: “Mu a-nụ eliphe l'ophu aphụ iphe-
ẹji iya. Mu anụa ndu ẹjo-iphe aphụ ẹjo-iphe, ẹphe eme.
Mu emee gẹ ndu anọduje aba abaa te ekuhẹ onwophẹ;
bya ekuzeta ndu eku onwophẹ l'ọkponu ọkponu phẹ.
12 Mu e-me gẹ nemadzụ dụ ụko lẹ mgboko; mbụ g'ọ ka
ọkpobe mkpọla-ododo adụ ụko. L'ọ kakwaphọ mkpọla-
ododo ọphu shi l'alị Ofi adụ ụko. 13 Mbụ-a; mu e-me

g'imigwe l'ophu nmahụ jiijiijii. Eliphe anmaa jiijiijii jasụ ọokporiberu l'ẹka o shi ngụru. Ọ bụru iphe, a-kpa iya nụ bụ oke ẹhu-eghu ono, bụ ọphu a-nọdu eghu mụbe Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike l'eswe oke ẹhu-eghu mu ono.

14 "Ọ bụru gẹ mgbada, aachị ọso agbajẹ-a; ọzoo g'atụru, enwedu onye eche iya nụ agbakashịhujẹ-a bụ g'onyemonye a-nọdu agba agbapfu ndu ẹphe l'ẹphe bụ. Mbụ l'onyemonye a-zẹ l'ọso agba ala ẹka a nwụru iya.
15 Onyemonye a -hụmakwanuru ahụma; aa-nmafua ya ẹpho. Teke ọ bụ onye e guderu egude; ọola l'ogu-echi.
16 Ụnwegirima phẹ bẹ aa-nọdu l'iphu phẹ gbubushia mkpirikpu mkpirikpu. L'a kwaa iphe phẹ l'ọkwata; phatọshia ụnwanyi, ẹphe alụ alụlu.

17 "Lekwa; ọ kwa ndu Midiya bẹ mu a-kpatsu g'ẹphe jepfu phẹ ọgu. Ndu adụdu iphe, ẹphe gụberu mkpọla-ọchaa; ọphu mkpọla-ododo agụdu phẹ ẹgu. 18 Apfụ phẹ e-yebushi ụnwokorobya phẹ eyebushi. Ọphu imemini akpụru-iphe, shi l'ẹpho a-dụdu phẹ. Ẹphe -gude ẹnya hụma ụnwegirima nshịi; ẹphe ta aphụduru phẹ obu-imemini. 19 Tẹmanu-a; alị ndu Bábilọnu ono, bụ ẹka e gude akwabẹ alị-eze ọzo ùbvù ono; mbụ ẹguru alị ono, bụ iya meru ndu Bábilọnu; ẹphe nọdu eku onwophẹ ono; alị ono bẹ Chileke e-mechaa mebyia g'e mebyiru Sọdomu yẹe Gọmóra. 20 Ọ tọ bụbaeduru ẹka ee-buru eburu jasụ l'ojejoje. Ọphu nemadzụ abyadụ ebuba l'ime iya; e -shi l'ọgbo sweru ọgbo. Ọphu ọ dụdu ndu Arabu akpọbe iya ụlo-ẹkwa; ọphu ndu eche atụru adọbedu iya atụru phẹ. 21 Iphe, a-dọru iya nụ a-bụru anụ, ebu l'echiẹgu. Ọ bụru nkụta-ọswa bụ iphe, akụjeru l'ụlo, wụshiru iya nụ. Mgbashị-ujiku akụkwaru iya phọ. Eghu-ọswa apfụ-phe karagidingu karagidingu l'ime iya. 22 Achị-anmabu a-nọduje l'ụlo phẹ, a kpụshiru ike ara ntụmatu. Nkụta-

ọswa akụru l'ụlo phẹ ndu ọphu shi bụru ẹguru ụlo. Ọzo bụ lẹ teke ee-me iya iphe ono dụwaa ntse; mbụ l'ọ tọo nọedu ọdu l'ọ nwụa."

## 14

1 Chipfu a-phụru Jiékọpu obu-imemini k'ọphu bụ
l'oo-mechaa họta Ízurẹlu ọzo; mee g'ẹphe buru l'alị
phẹ ọzo. Ndu lwarụ alwalwa ayịkwaru iya phọ.
Ndu lwarụ alwalwa ono ẹphe l'ọnu-ụlo Jiékọpu ebua
ẹghirigha. 2 Ọhamoha l'e-duta phẹ dulata l'alị ẹphebe
ndu Ízurẹlu gẹdegede. Ndu Ízurẹlu ono a-bụru ndu e-
nweru ọhamoha; mee phẹ; ẹphe abụru phẹ ohu: unwoke
l'ụnwanyi l'alị ọphu Chipfu nụru phẹ l'onwiya. Ẹphe
aghaa ọhu kpụa ndu ono lẹ ndzụ; mbụ ndu ono, shi kpụa
ẹphebedua lẹ ndzụ ono; bụru ndu a-nọdu elekọta ndu
shi emekpa phẹ ẹhu.

### *Adada eze ndu Bábil*ọnu

3 Chipfu e-me g'obu tụshihu unubẹ ndu Ízurẹlu
l'aphụ-a, unu erigbabe-a; mẹ iphe-ẹhuka-a, unu
ejegbabe-a; mẹkpoo ozi mkpọnwu-ẹhu-a, e keru unu-a.
4 Noo teke unu a-wata atụru eze ndu Bábilọnu phukuku
sụ: Onye-a, bụ nwa-mmekpa-ẹhu-a gbẹ meẹkwadupho
bugengu! Ẹhu gbẹ ghubuhuwa iya nụ eghu! 5 Chipfu
gbajishiwaru mgbọrígwè, ndu ẹjo-iphe ono shi swebe
phẹ l'olu; mẹkpoo oshi, ndu-ishi shi gude echi phẹ
ẹchachi; 6 bụ ndu shi egudeje ẹhu-eghu echi ndiphe iphe
nchipyabẹ; mbụ l'ẹphe gude ẹnya, ata phẹ kpịtikpiti
lwụ-kpee ọha, dụ igwerigwe; ọphu ọ dụdu onye egbo
phẹ nụ. 7 Eliphe l'ophu bẹ atụtawa unme nta-a. Tẹme
nchị dụwaa phẹ doo. Olu-ebvu gbụfu phẹ l'ọnu. 8 Mbụ
l'oshi payịnu; mẹkpoo oshi sida k'úbvú úbvú Lébanọnu
bẹ ẹhu tụkocharu atsọ l'opfu ẹhu ngu. Ẹphe tụko

epfu sụ: Nta-a, e wozewaru ngu-a bẹ ndu ekwo oshi ta abyaẹdu anyi ekwotsushi.

9 “Alị-maa kwagebewaru akwagebe g'ọ gba ngu ndzuta
mẹ ị -lashịa. O doziwaru ụnwumaa, l'abya ngu ndzuta;
mbụ maa iphe, bụkpoo ndu ono, shi bụru ishi l'eliphe-
a. Ndu ono bẹ o meru g'ẹphe gbẹshichaa agbẹshi l'aba-
eze phẹ; mbụ ndu shi bụru eze ọhamoha. 10 G'ẹphe ha
l'e-yeru ngu ọnu sụ ngu: ‘?Gụbedua kwaphọ mechaarụ
bya adụhukwa edzu g'anyịbedua; mbụ bya abụhukwaru
iphe, anyi bụ? 11 Akpabiri ngu ono g'ọ ha bẹ e nwuwaru
ye l'alị-maa; yẹle ọha-gengugengu ogumogu ngu onoya.
Ẹ̀kà bụwaa iphe-azẹe, ị zẹ l'eli. Mgbashiride bụwaru
ẹ́kwà, ị phụshiru l'iphe-azẹe ngu ọbu.’ ”

12 Lewarọ g'i shi l'imigwe daa l'alị; gụbe kpokpode
nchi-abọhu; mbụ gụbe nwatibe ọnma-ẹwa-ụtsu! E
chitsuwaru ngu chiru ngu ye l'eliphe; mbụ gụbe onye shi
byapyabẹ ọhamoha l'ophu! 13 I pfuwaru l'ime ọkpoma
ngu sụ: “Mu e-kuli onwomu kuba l'imigwe. Mu a-pali
aba-eze mu g'ọ ha l'eli l'eli; g'ọ kakọta kpokpode kẹ
Chileke l'eli. Mu e-je anmakoru l'eli úbvú-ndzukọ ono, nọ
l'ụzo isheli ono. 14 Mu a-tụkoepho akpaminigwe l'ophu
nyighakọta je anọdu; mee onwomu gẹ mu ha gẹ Ọkalibe-
kakọta-shii.” 15 Obenu l'a byazeru ngu byaru ngu ye l'alị-
maa; l'ọhulohu nsụkutu ono.

16 Iphe, bụ ndu hụmaru ngu nụ a-gbẹ lerwebaa ngu
ẹnya elerwe; ẹphe awata arị ọriri ẹhu ngu sụ: “Tọ bụnaa
onye-a bụ onye ono, meru mgboko; ọ nmahụ jiijiijii-a;
mbụ onye ono, akpabiri iya guderu alị-eze l'ophu? 17 ?
Tọ bụna iya bụ onye ono, meru mgboko l'ophu; ọ dụ
g'echiẹgu; tsupyashịru mkpụkpu, a kpụshiru ike, nọ lẹ
mgboko; ọphu ọ dụdu ndu mgboko, ọ kpụru lẹ ndzụ,
dụru ọphu o kweru g'ẹphe la ibe phẹ-a?”

18 Iphe, bụkpoo ndu shi bụru ndu-eze, ọhamoha l'ophu
bẹ e mekọtaru ọna lia. Onye ọphu nọnu l'ọoze l'ime ilu
nkiya. 19 Obenu lẹ gụbedua bẹ a chịfuru l'ilu nkengu;
tuphaa ngu g'onye gbutaru ẹkali-oshi tuphaa. A chịkoo
ndu e gburu egbugbu tụpyabe ngu; mbụ ndu e gude
ogu-echi nmafushia ẹpho; ndu wụru laa lẹ mkpuma
ọphu nọ l'alị-maa. Ọo g'odzu, a zọru pyakapyaka adụje-
a bụ g'ị dụ. 20 E tee lidu odzu ngu g'e liru kẹ ndu
ọphuu; kẹle ị mebyishiwaru alị ngu; bya egbua ndibe ngu
pyaapyaa. Awa ndu ẹjo-iphe bẹ a ta abyakwa ephotaje
ephota ophu ọzobaa. 21 G'e dozia ẹka ee-dobe ụnwu iya
gbushia gbudoru iphe-ẹji, nna phẹ oche metaru. G'ẹphe
te ejekwa agbalihu kẹ gẹ mgboko bụru okiphe phẹ;
ẹphe egude mkpụkpu lẹ mkpụkpu phẹ buchishia eliphe
l'ophu.

*Chileke e-mebyishi Bábil*ọnu

22 Lẹ Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike pfukwaru sụ:
"Gẹ mu bya agbalihu tsoo Bábilọnu ọgu; mbụ lẹ mu e-
me g'ẹpha Bábilọnu chịhu; yẹle ndibe iya, wafụru nụ;
mẹkpoo awa iya yẹle oshilọkpa iya. 23 Mu e-me alị ono
l'ophu g'ọ bụru alị ẹbyi. Mu emee ya l'ọ bụru alị ụda.
Mu e-gude ọla-l'iswi zaa phẹ l'ẹza." Noo iphe, Chipfu, bụ
Ọkalibe-Kakọta-Ike eepfu.

*Chileke e-mebyishi Asiriya*

24 Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike ribuwaru iya l'angụ
sụ-a: "Tororo bụ opfu bụ l'ọo gẹ mu tụberu g'iphe dụ
bụ g'ọo-dụ. Ọ bụru iphe, mu pfuru bụ iphe, e-me nụ.
25 Mu e-gwekwa ndu Asiriya uji; mbụ ndu Asiriya ono,
nọ l'alị mu ono. Ndu ọphu nọ l'eli úbvú iya bẹ mu a-
zọ tọlitoli nwufu phẹ. Ọphu ndibe mu evuẹdu ivu ẹhu
phẹ. Ọphu mkpa phẹ adụedu phẹ l'ukuvu." 26 Nokwa gẹ
mu chịru l'ọo-dụru ụnwu-eliphe l'ophu bụ ono. Nokwa

ẹka njọ, mu machịru l'ẹhu ọhamoha l'ophu. 27 Noo kẹle
ọo Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike tuburu l'onoo g'ọo-
dụ. Ọphu ọ dụkwa onye sụru agbanwe iphe, o pfuru.
Ọ machịakwaru ẹka; ọphu ọ dụkwa onye sụru iya esela
ẹka azụ.

### *Chileke e-mebyishia Filisitayinu*

28 Ọ kwa l'apha eze ono, bụ Éhazu nwụhuru bẹ mu
natarụ ozi-a. Ozi ọbu sụru-a: 29 "Unu te etekwa ẹswa;
unubẹ ndu Filisitayinu g'unu ha; opfu lẹ mgbọro, e chiru
unu gbajihuru; kẹle iphe, e-shi l'agwọ ono fụta bụkwa
ogiji. Akpụru, ọo-mịta bụru ọkpontu, apfụ saa saa.
30 Noo teke onye kachaa akpa nri l'ime ndu akpa nri a-
hụma nri riaha. Ndu adụdu g'ọ dụ phẹ azẹ pyakọo; ọ
tọ dụdu iphe, byaru eme phẹ nụ. Obenu l'ọgbarabvu
nkengu bẹ mu e-gude ọkpa-nri mebyishia. L'o woru nwa
ndibe ngu; nwa ndu ọphu phọduru nụ phụshikota tẹerii.
31 "Chia mkpu gụbe ọguzo! Tụa ụzu-ẹkwa unubẹ
mkpụkpu ndu Filisitayinu l'ophu! Unubẹ ndu Filisitayinu
g'unu ha; unu tụko zashịhu azashịhu; kẹle ẹnwuru-ọku
shikwa l'ụzo isheli akpụ tụutuutuu abya. Ọphu ọ dụdu
onye a-nọdu eje nkịnyi iya l'ọgbo-ọgu phẹ."
32 ?Bụ ọnu gụnu bẹ ee-yeru ndu-ozi, shi l'ọha onoya?
"Ọnu, ee-ye bụ lẹ Chipfu meakwaru Zayọnu; ọ ngụru
angụru. Ọ bụru l'ime iya bẹ ndibe iya, aakpa ẹhu a-
gbaba je ezee ndzụ."

## 15

### *Chileke e-mebyishi Mówabu*

1 Ọwaa bụ ozi, Chileke ziru zidoru ndu Mówabu.
Mkpụkpu Aru, nọ l'alị ndu Mówabu bụakwaa mkpu-
rupyata. Ọ bụru ẹnyashi bẹ e gude mebyishia ya.

Mkpụkpu Kiru, nọkwapho l'alị ndu Mówabu bụru mkpu-
rupyata. Ọ bụru ẹnyashi bẹ e gude mebyishia ya.
2 Ndu mkpụkpu Dibọnu wụru jeshia l'ụlo agwa phẹ;
ẹka ẹphe meru; ọ ha l'eli jeshia akwa ẹkwa. Mbụ lẹ
ndu Mówabu atụ ụzu-ẹkwa ndu mkpụkpu Nebo; yẹe
kẹ Medeba. Onyemonye kpụshiru ishi bya akpụshia
ẹ́jí-agba. 3 Ndu eje lẹ gbororo yegbaa uwe-aphụ. Ndu
nọ l'ọma ụlo-eli mẹ ndu kụru l'edupfu tụko atụ ụzu-
ẹkwa; arwaphu onwophẹ l'alị akwa ntụmatu. 4 Ndu
mkpụkpu Hẹshibonu mẹ ndu mkpụkpu Eleyale tụko
echi mkpu k'ọphu ndu nọ lẹ mkpụkpu Jiahazu anụ olu
phẹ. Noo g'o gude ndu ojọgu ndu Mówabu chishia mkpu;
kẹle meji tsukahụru phẹ. 5 Ụzu ẹkwa atụ mu l'obu
l'iswi ẹhu Mówabu; kẹle ụnwu iya, eje phururugbada
agba ọso agbarwuchaa mkpụkpu Zowa; ndu agbarwua
mkpụkpu Ẹgulatu-Shelishiya. O nwechaaru ndu ọphu
jerwuchaaru mkpụkpu Luhiti. Ẹphe -nọdu eje; ẹphe
akwa ntụmatu. Teke ẹphe tsoru ụzo ala mkpụkpu
Horonayimu bẹ ẹphe nọ l'ụzo raa ẹkwa ọla-l'iswi phẹ
ono. 6 Mini, nọ lẹ nggele Nimurimu tashịhuru; ẹswa
nwụlwashihu. Ẹgbudu kpọshihu nkụ; ọphu ọ dụedu
iphe, dụ oyii, phọduru iya nụ. 7 Ẹku, ẹphe kparụ
akpakpa kụbe; mbụ akanya, ẹphe seru dobe bẹ ẹphe e-
vuta je adaghata nggele oshi wilo; 8 kẹle ojilẹka tọgbo,
ẹphe echi agba Mówabu mgburugburu. Ụzu-ẹkwa, ẹphe
atụ rwuchaaru mkpụkpu Ẹgulayimu. Tẹme erwubvu
phẹ rwuchaa mkpụkpu Biye-Elimu. 9 Mini mkpụkpu
Dimọnu bẹ mee jiwaru ejiji; obenu lẹ mu e-mebakwaaro
mkpụkpu ọbu, bụ Dibọnu iphe, ka njọ. Mbụ lẹ mu a-
chịru oduma ye g'ọ tagbushia ndu shi iya nụ agba ọso
ndzụ phẹ; tagbushikwaphọ nwa ndu ọphu phọduru l'alị
ono l'ophu.

# 16

1 Ndu Mówabu chịtaru nwatụru g'ọ bụru iphe-oku;
chịru je anụ eze ndu alị-a. Mbụ l'e shi lẹ mkpụkpu Sela
chịru iya je aghaa echiẹgu tụgbua jeshia l'úbvú Zayọnu je
achịe ya ndu bu iya nụ. 2 Ọ kwa g'ụnwu-ẹnu, a chịkaru
l'ẹpfune epheje nanụnanu-a bụ g'ụnwanyi Mówabu agba
nanụnanu shia agụga nggele Anọnu ibiya ọphu eerwuje
iya erwurwu.

3 Ẹphe nọdu epfu sụ: "Unu kpozinaaru anyi ụzo! Unu
pfunaaru anyi iphe, l'e-me nụ! Unu menaa g'onyonyo
unu bụru anyi ìbvù, l'a-dụ kẹ kpuchii g'ẹnyashi. Unu
dominaa anyịbe ndu eje phururugbada; ọphu unu atụkwa
anyịbe ndu agba ọso ndzụ jala. 4 Unu kwenu g'anyịbe ndu
ono, a chịru ọso shi l'alị ndu Mówabu lwapfuta unu. Unu
kpuchinaa anyi g'onye mmebyi ono te emebyi anyi!

"O -rwua teke ndu mkpamẹhu a-chịhuwa; ndu mme-
byi abụwaru bugengu; ndu emeje nemadzụ ewere
bvụebekpo l'alị-a l'ophu; 5 bẹ Chileke e-goshi n-yemobu
iya; woru onye apfụshije ike l'iphe, o pfuru, shi l'ọnu-
ụlo Dévidi mee g'ọ bụru eze; mbụ onye abụjeru; ọ -
nọdu ekpe ikpe l'o kpe iya l'ụzo, pfụru ọto. Ọphu ọopadu
apfụbekoto ẹka lanụ."

6 Anyi nụmawaru gẹ ndu Mówabu ekube onwophẹ;
l'ẹphe anyanụka ndu; tẹme ẹphe nọdu etse etsetse.
L'ekuku ono, ẹphe eku onwophẹ ono; mẹkpoo sukusuku
ono, dụ phẹ l'ẹhu ono bẹ pawaru ẹka. Ọle ẹpha ono,
ẹphe etu onwophẹ ono bụkota okorobo iphe.

7 Noo g'o gude ndu Mówabu nọdu ara ẹkwa Mówabu
ọbu arashị iya ike. Mbụ l'ẹphe tụkoru ara ẹkwa
iya. Unu rashịkwa ẹkwa ike; g'o rwukwaa unu l'ẹhu,
bụ opfu ẹhu ọkpa-ụlo, e gude kpụa mkpụkpu Kiru-
Harẹsetu. Unu gụa aphụ iya; kẹle e tsuwaru iya
pyaapyaa. 8 Ẹgu mkpụkpu Hẹshibonu bẹ iphe, a kọru iya

nwụkotawaru lwaa. Vayịnu, a kọru lẹ mkpụkpu Sibuma
nwụkwaapho lwaa. Ndu-ishi ọhamoha zọwaru ọkpobe
vayịnu, dụ iya nụ pyaapyaa; mbụ vayịnu, shi abajẹ
ụba barwua mkpụkpu Jiaza; mbụ bawarọ ụba tsowarụro
ụzo echiẹgu. Ẹri iya bawarọ ụba ono jerwuchaa eze-
ẹnyimu. 9 Noo ya; mbẹdua nọdu arakwaphọ ẹkwa
ẹgube ono, ndu Jiaza ara ono. Mu arakwaphọ ẹkwa
vayịnu ndu Sibuma. Unubẹ ndu Hẹshibonu; unubẹ ndu
Eleyale; mu gudeakwa ẹnya-mini awụ unu ẹhu; kẹle
okwe, e shi erwujeru ekpu iphe, unu meberu l'alị mẹ ọ
-chashịahaa; yẹe okwe, e shi erwuje mẹ a -kpataahaa
ya akpata; bẹ bụkotawa sụtukumu. 10 Ẹhu-ụtso yẹe
ete ẹswa bẹ a nafụwaru ẹgu ono, a kọru oshi-ọmi ono.
Ọphu ọ dụedu onye anọdujekwadu l'ẹgu-vayịnu ono
agụ ebvu; ọzokwanu nọdu iya erwu okwe. Ọphu ọ
dụedu onye anọdujekwadu l'ẹgu ono akụ mẹe-vayịnu.
Noo kẹle mu buchiwaru akwa ẹvu, e shi anọduje l'ẹka
ono akwa. 11 Ọkpoma mu akwa ẹkwa alị ndu Mówabu;
mbụ l'ọkpoma azụ mu ụzu g'onye akpọ ogumogu. Ime
obu mu nọdu akwaru ndu Kiru-Harẹsetu ẹkwa. 12 Ndu
Mówabu -nọdu eje l'ẹka ẹphe agwajẹ iphe; bụepho ike
bẹ ẹphe eme g'ọ ka phẹ abvụbvu. Mbụ teke ono, ẹphe
eje l'agwa phẹ je iya agwagwa bụ iphe, abụdu iphe bẹ
ẹphe eme.

13 Noo opfu, Chipfu pfuhawaru l'opfu ẹhu ndu Mówabu.
14 Obenu lẹ nta-a bẹ Chipfu ono sụru: “L'ọ kwa apha
ẹto bẹ ọ phọduru; mbụ l'aagụakwaru alị ndu Mówabu
apha g'onye-ozi, e ziru ozi, ọo-nọdu eje. Apha ẹto bẹ ọ
phọduru úbvú ono, alị ndu Mówabu dụ ono; mẹkpoo
ikpoto igwe ọha ono, bu iya nụ ono abụkotaru ndu a
gụbeduru iphe. Nwa ndu a-phọdu nụ aha nwanshịi shii;
tẹme ọphu ike adụdu phẹ.”

# 17

*Chileke a-n*ụ ndu Arámu; waa ndu Ízurẹlu aphụ

1 Ọwaa bụ ozi, Chileke ziru lẹ k'ẹhu ndu mkpụkpu
Damasụkosu: "Lewarọ; Damasụkosu e-mechakwaa bụ-
buhuru mkpụkpu. Iphe, oo-mecha bụru bụ ikpọzu.
2 Mkpụkpu lẹ mkpụkpu ono, azagba Arowa e-mechaa
bụkotaru ẹka e budu ebubu. Ee-mechaa pakọtaru iya
haarụ atụru; waa eghu g'ọ bụru ẹka ẹphe a-dọjeru; ọ
tọ dụdu onye eye phẹ ebvu. 3 Mkpụkpu lẹ mkpụkpu
ono, a kpụshiru ike ono bẹ e-mechaa chịhu l'alị ndu
Ifuremu. Ọphu ndu Damasụkosu e-nweẹduru onye a-
bụru eze phẹ. Ọo g'ee-me ndu Ízurẹlu iphe-iphere-
a bụkwapho g'ee-me ndu Arámu. Nokwa iphe, yẹbe
Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike eepfu bụ ono."

4 "O -rwua teke ono bẹ ùbvù, aakwabẹ oshilọkpa
Jiékọpu a-ngachafụ. Okporokpo ono, ọ dụ ono awụfu.
5 Ízurẹlu a-dụ g'onye akpata iphe l'opfu; g'onye egbu
ereshi, pfụru apfụru, bụ ẹka bẹ oogudeje ekpokọbe iya.
Tẹme l'ọ dụkwapho g'onye akpa ụkpa ọyoko ereshi lẹ
nsụda Refayimu. 6 Ọle mkpakwa iya a-phọdunu iya-a.
Ọo-dụkwapho g'ẹka a nmarụ oshi-olivu yigayiga; l'ọ
phọdu nwẹbo ọzoo ẹto lẹ mkpakpa ọnu ẹkali-oshi, olivu
ọbu; phọdukwapho ẹno ọzoo ise l'eze ẹkali iya, mịshiru
ike. Noo iphe, Chipfu, bụ Chileke kẹ ndu Ízurẹlu epfu bụ
ono."

7 O -rwua mbọku ono bẹ amadụ a-gharu onye meru
iya nụ iphu. Mbụ l'ẹnya phẹ bẹ ẹphe a-tụko ghaa
l'ẹka Onye Nsọ kẹ ndu Ízurẹlu nọ. 8 Ẹphe ta aghaẹduru
ọru-nshi phẹ iphu; mbụ iphe, ẹphe gude ẹka phẹ mee.
Ọphu ẹphe agụbeedu itso Ashera iphe; yẹe ọnu ẹka
ẹphe akpọje ọku l'iphe, eshi kwẹekweekwee, bụ iphe,
ẹphe gude ẹka phẹ mee.

[9] O -rwua mbọku ono bẹ mkpụkpu phẹ, a kpụshiru ike
a-dụ g'ẹka a gbadoru agbado l'ime ọswa; ọzoo l'eli úbvú;
ọ bụru ndu meru iphe, a gbadoru iya bụ ndu Ízurẹlu.
Ẹkameka atụko bụru okorobo ẹgu.
[10] Kẹle-a; unu zọhawaru Chileke, bụ iya dzọtaru unu
ono. Unu ta anyatadụru onye ono, bụ agbara-mkpuma;
bya abụru onye meru unu; unu gbashịa ike ono. Ọ
bụru iphe ono meru g'o gude; o -betakpọnu unu kụa
akpụru oshi, kakọtakpoo ree; ọzoo l'unu kọru vayịnu,
unu dzetaru l'ọhozo; [11] mbụ-a; o -betakpọ unu mee g'ọ
wata aba ụba mbọku ono, unu kụru iya ono; o be l'ụtsu
iya; ọ wata atụ ige; unu ta awọtakwa iya mebyi; kẹle
ọ bụepho nrimaphụ yẹe iphe-ẹhuka bẹ mbọku ono a-
bụru.

*Alwụ*-kpe ndu ọhozo

[12] Oowaa! Ọ kwa ọha, dụ igwerigwe aba hanyịhanyi.
Hanyịhanyi, ẹphe aba dụ g'ẹka Eze Ẹnyimu aphụ
gbudugbudu. Oowaa! Gẹ ndiphe swọkoberu. Ẹphe
aphụ gbudugbudu g'ẹka oke-mini asọ gborogboro! [13] O
-betakpọnu ọhamoha phụchaa gbudugbudu gẹ mini,
a kụru ikpete; ọ bụ-a mba bẹ ọo-barụ phẹ; ẹphe
agbamihu ọkpobe agbamihu. L'a chịru phẹ ye lẹ
phẹrephere g'ẹswa ereshi, a nọ l'eli úbvú aphụshi;
yẹe gẹ bẹrebere iphe, phẹrephere apaphe l'ẹka oke
phẹrephere ezi. [14] O -be l'ụzenyashi; iphe, eye ebvu atụko
kụru. Nchi -bya abọhu; ẹphe abvụwaa. Noo ọnodu ndu
ono, egwe ivu anyi ono; mbụ okiphe ndu ono, akwa iphe
anyi l'ọkwata ono.

# 18

*Aphụ*, Chileke a-nụ ndu Kushi

[1] Nshị̣o gụbe alị ono, aanụ ẹphu ǹkù iphe, ephegbaa
l'agụga ẹnyimu ndu Kushi; [2] mbụ unubẹ ndu ezije ndu-
ozi unu; ẹphe etsoru mini. Mbụ ẹphe egude ụgbo-
èjì daghaa mini. Sụ-a; unubẹ ndu-ozi ọkpa-ẹgwa; unu
lapfunu ndu ono, ha l'eli bya akwọo akpọ-ẹhu bụruru
ono! Unu lapfunu ndu ono, aatsụ ebvu l'ẹka dụ ntse
mẹ l'ẹka dụ ẹnya; mbụ ọha, ike dụ l'ọgu; abyajẹ alwụa
lwụta; ọha, nggele nggele sọ-bushiru asọ-bushi!

[3] Unubẹ ụnwu-eliphe l'ophu; mbụ unubẹ ndu bu lẹ
mgboko-a; unu lenu! E -woliẹpho iphe-ọhubama imeli
imeli l'eli úbvú bẹ unu a-hụma iya-a. Teke e gbuẹrupho
opu ono bẹ unu a-nụma iya-a. [4] Waa iphe, Chipfu pfuru
nụ mu baa: “Mu a-nọduepho nggujingguji gbẹ l'ẹka mu
bu tụfu ẹnya ele; g'anwụ echi phuuphuu teke okpomọku
dụ; ọzoo g'urwukpu, akwa iji l'ọnanwu. [5] Kẹle-a; a -bya
erwu teke emetajẹ iphe, e meberu l'alị; mbụ teke iphe
e meberu l'alị agbawashịkwadu ige; iphe ono, shi bụru
okoko ono abụwaru mebyi iphe, chawaru k'awọta; noo
teke ọo-bya bya egude mma beshichaa ẹkali iya ono chịta.
[6] Noo teke aa-tụko g'ẹphe ha haarụ udele, bu l'ọma úbvú;
parụ phẹ haarụ ụnwu anụ, bu l'ẹgbudu. Ụnwu ẹnu
egude phẹ kpaa nri jasụ ọnanwu alaa. Ụnwu ẹjo-anụ,
bu l'ẹgbudu egude phẹ kpaa nri jasụ udzumini abvụ.”

[7] Noo teke aa-wata ewota iphe-ọma gude bya anụ
Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike. Ọ bụru ndu a-nọdu
ewotaru iya iphe ọbu bụ ndu ono, ha l'eli bya akwọo
akpọ-ẹhu bụruru ono; mbụ ndu ono, aatsụ ebvu l'ẹka dụ
ntse mẹ l'ẹka dụ ẹnya ono; ndu bụ ọha, ike dụ l'ọgu bya
alwụje lwụta; ọha, nggele nggele sọ-bushiru asọ-bushi.
Iphe-ọma ọbu bẹ ee-gudeje bya l'úbvú Zayọnu, bụ iya
bụ ẹka aanọduje araku Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike.

# 19

*Aph*ụ, Chileke a-nụ ndu Ijiputu

1 Ọwaa bụ ozi, Chileke ezi lẹ k'ẹhu ndu Ijiputu.

Unu lenu! Chipfu nọkwa l'urwukpu ezi phaaphaaphaa
agba abya Ijiputu. Agwa ndu Ijiputu nọdu anma
pyaapyaapyaa l'iphu iya. Meji rwushihu ndu Ijiputu.
2 “Mu a-kpali ndu Ijiputu g'ẹphe tsoje ndu Ijiputu ibe
phẹ opfu; k'ọphu unwune a-nọdu etso unwune phẹ ọgu.
Obutobu etso obutobu iya opfu. Mkpụkpu etso mkpụkpu
ibe iya ọgu. Alị-eze etso alị-eze ibe iya opfu. 3 Meji a-
tọfu ndu Ijiputu. Ẹphe -chịchaa idzu iphe, ẹphe e-me;
mu emee ya; ọ tọo dụdu g'ẹphe chịru iya. Ẹphe ejee
l'ẹja l'iphu nshi; jee l'ajị g'ẹphe kpata maa ishi. Ẹphe
ejee l'ajị l'ẹka ndu ajị maa; mẹ l'ẹka ndu agba ẹja. 4 Mu e-
woru ndu Ijiputu ye l'ẹka ndu a-nọdu eme phẹ omeliwe.
Ọ bụru onye a-bụru ishi phẹ bụ eze, eme ẹngiringa.”
Noo iphe, o pfuru; mbụ Nnajịuphu, bụ Chipfu; bya abụru
Ọkalibe-Kakọta-Ike.

5 Mini, dụ l'ẹnyimu Nayịlu a-tashịhu. Ogbu ogbu
nggele akpọshihu nkụ dụ kpọkoro-kpọkoro-kpọkoro.
6 Mini, awụ l'ósé a-nọdu eshi ishi. Nggele nggele, nọgbaa
l'alị ndu Ijiputu awata alwa alị alị eje jasụ l'ọotahu
ree. Okpete okpete; yẹe eji eji atụko nwụshihukota;
7 mẹkwapho iphe, a kụru l'agụga ẹnyimu Nayịlu, nọ
l'ọnu-ẹnyimu ono. Opfu, a kọru akọko l'ogbu ogbu
ẹnyimu Nayịlu l'a-dụkota kpọkoro kpọkoro kpọkoro.
Phẹrephere atụko iya pata; a taa hụmaedu iya. 8 Ndu
egbuje ẹma a-tsụ ude kwashịa ẹnya-mini. Mbụ iphe,
bụkpoo ndu eseje ịkokoro l'ẹnyimu Nayịlu; ndu anọduje
ese ụgbu-egege lẹ mini a-tụko nwụpyashihu. 9 Ndu
egudeje oghu ọchaa, ama mma gude akpa iphe a-chịhu.
Ndu ekwe ọkpobe ẹkwa ọchaa a-bụru ndu iphere e-gude.

10 Ndu bụ phẹ gude alị ndu Ijiputu abụru ndu e gwerụ
arakabya. Iphe, bụkpoo ndu eri ụgwo abụru ndu aphụ
tsọru.
11 Ndu-ishi lẹ mkpụkpu Zowanu bụkota ndu eswe.
Ndu maru iphe, bụ ndu anọduje akpọ-ziru Fero ụzo
nọdu akpọ-zi mkpọ-zi onye-eswe. ?Dẹnu g'unu e-shi
sụ Fero: “Mbẹdua yịkwa lẹ ndibe ngu ndu ọphu maru
iphe. Mu bụru nwa onye eze, shi l'ichee.” 12 Sụ-a; ?
bụ awe bẹ ndibe unu ndu maru iphe nọ nta? G'ẹphe
goshinụ unu g'iphe dụ; ẹphe emee g'unu maru iphe,
Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike doberu k'eme ndu Ijiputu.
13 Ndu-ishi lẹ Zowanu bụkotawa ndu eswe. Ndu-ishi lẹ
mkpụkpu Mẹmufisu bẹ e mewaru mkpurukpuru-ẹnya.
Ndu ono, bụ mkpuma, gude ụlo l'ọkpa-ipfu phẹ ono
bẹ duswewaru ndu Ijiputu ụzo. 14 Chipfu chịwaru unme,
achịje ẹnyaji chịru ye phẹ l'ẹhu. Ẹphe mee; ndu Ijiputu
nọdu akpọ galagala l'iphemiphe, ẹphe eme ẹgube ono,
onye ngụru mẹe anọduje akpọ galagala l'eli ẹgbo, ọ
gbọru ono; 15 k'ọphu bụ l'ọ tọ dụedu iphe, ishi ọzoo
ọdzu emeru ndu Ijiputu; ọphu ọ dụedu iphe, ẹkwo-igu
ọzoo okpete emekwaduru phẹ.

### *Ndu Ijiputu a-bar*ụ Chipfu ẹja

16 Teke ono bẹ ndu Ijiputu a-dụ g'ụnwanyi. Ẹphe e-
rwuhu lẹ ndzụ-agụgu; ọ bụru ẹka ọ paliru ẹka abya phẹ
echichi; mbụ Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike. 17 Alị ndu
Jiuda abụru iphe, ee-gudeje eye ndu Ijiputu ebvu. Onye
-nụmaru ẹka e kuru ẹpha ndu Jiuda; ndzụ erwuta iya.
Ọ bụru iphe, a-kpa iya nụ bu iphe, Chipfu, bụ Ọkalibe-
Kakọta-Ike e-mechaa mee phẹ.
18 Teke ono bẹ mkpụkpu ise l'alị ndu Ijiputu a-wata
epfu opfu-alị ndu Kénanu. Ẹphe eria nte l'ẹphe a-nọdu
l'ẹka Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike. Mkpụkpu ono bẹ
nanụ a-nọdu aza “Mkpụkpu Ọla-l'iswi.”

[19] Lẹ mbọku ono bẹ ee-dobe ẹka aa-gwajẹ Chipfu
l'echilabọ alị ndu Ijiputu. L'a kpụa iphe, e gude anyata
Chipfu akpụkpu dobe l'oke alị iya. [20] Ọoburu iphe-
ọhubama mẹ iphe, agba ekebe lẹ Chipfu, bụ Ọkalibe-
Kakọta-Ike nwụ ẹnya l'alị ndu Ijiputu. A -nọdu eme phẹ
mkpawere; ẹphe raku Chipfu; l'o zia onye a-dzọta phẹ
nụ. Onye ono abya anafụta phẹ. [21] Ọo ya bụ lẹ Chipfu
e-me gẹ ndu Ijiputu maru iya. Ọ bụru mbọku ono bẹ
ẹphe a-marweta Chipfu amarweta. Ẹphe e-gude anụ yẹe
nri gude bya agwaa Chipfu. Ẹphe -rifu nte l'ọwa-a iphe,
ẹphe e-meru Chipfu baa; ẹphe emeeru iya ya. [22] Chipfu
a-tụ ndu Ijiputu ẹhu. Ọ -tụchakwaa phẹ ẹhu ono mee
ẹphe ewekọrohu. Ẹphe alwapfuta Chipfu; l'ọ ngabẹ nchị
l'arwọrwo, ẹphe arwọ iya; mee; ẹphe ewekọrohu.

[23] Teke ono bẹ oji a-dabyiru swanmangu shi l'alị ndu
Ijiputu je adajaa alị ndu Asiriya. Ndu Asiriya ejeahaa
Ijiputu. Ndu Ijiputu ejeahaa Asiriya. Ndu Ijiputu ẹphe
lẹ ndu Asiriya atụko abarụ Chipfu ẹja ẹghirigha. [24] Lẹ
mbọku ono bẹ ndu Ízurẹlu a-bụru ndu k'ẹto mẹ a -gụa
Ijiputu yẹe Asiriya, bụ ndu a-bụru iphe-ọma, dụru eliphe
l'ophu. [25] Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike a-gọru ọnu-
ọma nụ phẹ sụ: “G'ọnu-ọma bụru kẹ Ijiputu, bụ ndibe
mu; yẹe Asiriya, bụ ndu mu gude ẹka mu mee; yẹe ndu
Ízurẹlu, bụ ndu bụ okiphe mu.”

# 20

*Iphe, oozi; mb*ụ onye mpfuchiru, gba ẹhu ọto

[1] L'apha, Tatanụ byaru mkpụkpu Ashịdodu; mbụ teke
Sagọnu, bụ eze ndu Asiriya ziru iya; ọ bya etsoo ndu
Ashidọdu ọgu; naa mkpụkpu phẹ; [2] bẹ Chipfu gude Azáya
nwa Emọzu pfua opfu. Iphe, o pfuru bụ: “Yefụ uwe-
aphụ ono, i yeru l'ẹhu ono; yẹe akpọkpa ono, i yeru

l'ọkpa ono!” O yefụ iya gbaru ẹhu ọto wata aghaphe;
gbakwarụpho ọkpa ọto tsoru ejephe. 3 Tọbudu iya bụ;
Chipfu pfua sụ: “Ọo ẹgube ono, onye-ozi mu, bụ Azáya
gba ẹhu ọto gbaru ọkpa ọto ghaphewaa apha ẹto ono; ọ
bụru iphe-ọhubama; yẹe iphe, dụ biribiri, e meru ndu
Ijiputu yẹe ndu Kushi ono; 4 noo g'eze ndu Asiriya a-kpụ
ndu Ijiputu yẹe ndu Kushi lẹ ndzụ; yeshia phẹ uwe;
gbabẹ phẹ ọkpa ọto kpụru phẹ lashịa; mẹ ụnwokorobya
phẹ; mẹ ndu bụ ọgerenya phẹ; ẹbohu egheeru phẹ ọnu
g'ọ bụchaaru iphe, ee-gude mee ndu Ijiputu iphe-iphere.
5 Ndu kpọru obu yeru ndu Kushi; bya egude ndu Ijiputu
eku onwophẹ bẹ ndzụ e-rwuta; tẹme iphere emekwa
phẹ phọ. 6 Noo mbọku iphe, bụ ndu bukube eze-ẹnyimu-
a e-pfu sụ: ‘Unu hụmawaro iphe, meru ndu ono, anyi
kpọru obu yeru ono; mbụ ndu ono, anyi gbaru ọso gbapfu
g'ẹphe yeru anyi ẹka nafụta anyi l'ẹka eze ndu Asiriya! ?
Dẹnukpoo g'anyi e-me nahụ?’ ”

# 21

*Alw*ụ-kpe ndu Bábilọnu

1 Ọwa-a bụ ozi, Chileke ezi ndu bu l'echiẹgu ono, nọ
l'agụga eze ẹnyimu ono:

Ọo g'oke-phẹrephere eshije l'echiẹgu ndọhali ezi abya
ono; bụ g'oo-shi l'echiẹgu ono bya. Mbụ l'oo-shi l'alị,
eye ebvu bya. 2 Ẹjo ọphulenya bẹ e goshiru mu; ẹka
nwoderu-oye deru ndu alị iya ye; nwọkwata nọdu akwa
ọkwata.

Unubẹ ndu Elamu; unu gbalihu lwụa ọgu! Unubẹ
ndu Midiya; unu nọ-phee ndu ọhogu unu mgburugburu!
L'ude ono, ẹphe meru; ndiphe tsụa ono g'ọ ha bẹ Chileke
buchiakwaru. 3 Noo g'o gude ogwẹhu mu l'ophu nọdu
emekọta mu ẹhuka; ẹhu nọdu aphụkota mu ụphu. Mu
dụepho gẹ nwanyị, ime eme. Anụma, mu nụmaru iya

mee mu; mu kpọhu kulakula. Ahụma, mu hụmaru iya
nmakọta mu ẹhu jiijiijii. 4 Meji nọdu akụ mu phẹripheri;
ndzụ-agụgu mee mu; ẹhu nọdu anma mu anmanma.
Nchi-ejihu, shi adụje mu ree shi byawaru bya abụru iphe,
anyi mu ishi ẹdzu.

5 Ẹphe gweshia nri; bya atọgbochaa utute-ukpo; bya awata eri nri; angụ iphe, aangụ angụngu. A nọnyaepho; ọ bụru: "Unu zelihu unubẹ ndu-ishi ojọgu! Unu tụa manụ lẹ ngwọgu unu!"

6 Waa iphe, Nnajịuphu pfuru mu baa. "Je je edobe onye-
nche, a-nọdu elefu ẹnya! G'onye ono pfujekwa iphe, ọ
hụmaru! 7 Ọ -hụma ụgbo-ịnya; mẹ ikpoto ndu agba
l'ịnya; mẹ ndu agba nkapfụ-ịgara; ọzoo ndu agba ịnya-kamẹlu; g'ọ rụkota onwiya; mbụ rụkota onwiya ọkpobe arụkota."

8 Noo ya; onye-nche ono chia mkpu sụ: Onye nwe
mu nụ; mbọku-mbọku bẹ mu a-nọduje l'onyi-eli-a eche
nche. Mbụ l'ẹnyashi mbọku-mbọku bẹ mu anọduje
nche l'ẹka a sụru gẹ mu nọdu. 9 Lekpọdapho; o nweru
onye nọ l'ụgbo-ịnya; mẹ ikpoto ndu agba l'ịnya etso iya. Ọ nọdu epfu sụ: "Ọ daakwaru! Mkpụkpu Bábilọnu daakwaru! Ọzo bụ l'iphe, bụ agwa mkpụkpu ono l'ophu, bụ iphe, bụ agwa nkephẹ bẹ e chikọtawaru pyaapyaa; o rwukọta alị."

10 Sụ-a; unubẹ ndibe mu; unubẹ ndu e gwerụ uji l'ọma ẹka eechichajẹ balị; iphe, mu epfuru unu bụkwa iphe, mu nụmaru l'ọnu Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike; l'ọnu Chileke kẹ ndu Ízurẹlu.

## *Ozi, Chileke ziru l'*ẹhu ndu Edọmu

11 Wakwa ozi, Chileke ziru lẹ k'ẹhu Duma.

O nwekwarụ onye gbẹ l'alị Siye eku mu oku sụ: "Onye-nche; ?abalị jeberu ijebe-agha? Onye-nche; ?ẹnyashi jeberu ijebe-agha?"
12 Onye-nche yee ọnu sụ: "Nchi abọhuakwa; bya
ejihuẹkwapho. Ọ -bụru l'unu akpata ishi; unu kpata ishi. Unu lwadụpho azụ ọzobaa."

*Ozi, Chileke ziru l'*ẹhu ndu Arabu
13 Waa ozi, Chileke ziru lẹ k'ẹhu ndu Arabu.
Sụ-a; unubẹ ndu ije, shi l'alị ndu Dedanu; unu je je
adọru l'ọswa ndu Arabu. 14 Unu kutakwa mini, unu a-
nụ ndu mini agụ; unubẹ ndu ọphu bu l'alị Tema! Unu
wotakwa nri bya anụ ndu agha phurii! 15 Ndu ono bẹ
bụ ndu gbalarụ ogu-echi; mbụ ndu a miliru mma; ẹphe nahụ gbalaa. Ndu e setarụ apfụ kẹ kịkiki g'a gbaa. Ẹphe shi l'ẹka ọgu ekpo ọku ono nahụ gbalaa.
16 Wakwa iphe, Nnajịịuphu pfuru mu baa: "Aagụakwaru
ndu Keda apha ọgu g'onye e butaru ozi, ọo-nọdu eje. Ọ kwa apha lanụ bẹ ọ phọduru; iphe, bụkpoo ùbvù,
aakwabẹje ndu Keda a-bvụkota. 17 Nwa ndu a-phọdu nụ
l'ime ndu agbajẹ apfụ; mbụ ndu ike dụ l'ụnwu Keda ta abaẹdu ishi; kẹle ọ kwa Chipfu pfuru iya; mbụ Chileke kẹ ndu Ízurẹlu."

# 22

*Ozi, Chileke ezi l'*ẹhu ndu Jierúsalẹmu
1 Ọwaa bụ ozi, Chileke ezi ndu bu lẹ Nsụda Ọphulenya
ono.
Sụ-a; ?bụ gụnu eme ngu nta-a, meru g'o gude; ndibe
ngu tụko wụfu wụba l'ọma mkpotsu ụlo; 2 mbụ gụbe
mkpụkpu ono, bụ iphe, jiru iya nụ bụ etsu ùtsú. Gụbe mkpụkpu, agba gharagharaghara bya eme rigbarigba.
Ndibe ngu, e gburu egbugbu ta abụkwa ogu-echi bẹ e gude gbua phẹ. Ọphu ọ bụkwa l'ẹgu ọgu bẹ ẹphe

nọ nwụhu. 3 Ndu-ishi ngu g'ẹphe ha tụkowaru ye ọkpa
l'ọso gbalaa. A kpụru phẹ lẹ ndzụ; ọphu e gudedu
apfụ. Iphe, bụkpoo unubẹ ndu e guderu bẹ a tụkotaru
mkpọro tụgbabe atụgbabe; l'unubẹ ndu gbalarụro teke
ndu ọhogu unu nọkwaduro ẹnya. 4 Noo g'o gude mu
sụ: Unu wofu mu rọ ẹnya. Mbụ-a; unu haa mu gẹ
mu kwaa ẹkwa kwaghee ya akwaghe. G'e b'ejekwa mu
egbogbo l'ẹka ọ bụ ndibe mu bẹ eeme omeliwe ono.
5 Kẹle Nnajịuphu, bụ Chipfu; mbụ Ọkalibe-Kakọta-Ike
bẹ meakwaru eswe mbọku ono; ọ bụru mbọku, ùtsú
daru; a zọo iphe pyaapyaa. Ndzụ rwuta onyemonye
lẹ Nsụda Ọphulenya ono. Eswe mbọku ono bẹ ee-
nwukpọshi igbulọ; l'a nọdu araku eze úbvú g'ọ gbaa
mkpu.

6 Ndu Elamu byakwa bya achịta ẹkpa apfụ phẹ jeshia
ọgu; bya achịta ndu gude ụgbo-ịnya alwụru phẹ ọgu;
mẹ ndu gude ịnya eje ọgu gude jeshia. Ndu Kiru bya
ekpuhaa iphe-mgbobuta phẹ woru ghebe ọnu. 7 Nsụda
unu ọphu kachaa ree bụ iphe, jiru iya nụ bụ ụgbo-ịnya.
E woru ndu gude ịnya eje ọgu yechaa g'ẹphe che ọnu-
abata mkpụkpu nche. 8 Ọo ya bụ l'iphe, gbobutaru alị
Jiuda bẹ a nashịchawaru iya.

O be mbọku ono; unu leaha ẹnya ngwọgu ono, kụru
l'ibe eze, e meru l'oshi sida, shi l'ọswa, dụ l'úbvú úbvú
Lébanọnu. 9 Unu hụmawaru lẹ mkpụkpu Dévidi gbaru
ọru l'ẹka dụ igwerigwe. Unu kukọo mini, dụ l'okpuru
mkpozeta sụkaa ya. 10 Unu bya agụa ụlo, dụgbaa
lẹ Jierúsalẹmu ọgu; bya aharu phẹ tsukpọshia gude
mekwaa agbarike igbulọ Jierúsalẹmu. 11 Unu bya atụa
okpuru lẹ mgbaka igbulọ labọ ono gẹ mini shi l'akahụ
okpuru ono wụbata iya dọru. Ọphu unu agbapfuduru
onye bụ iya tụru okpuru ono atụtu; mbụ ọphu unu
akpakpọdarunu onye ono ishi; mbụ onye ono, bụ iya

chịru idzu l'ọwa-a g'ọo-dụ teke dụhakpowaro ẹnya ẹnya
kpọ.
12 Tọbudu iya bụ; o be mbọku ono; Nnajịuphu; mbụ
Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike bya ekua unu sụ g'unu
bya araa ẹkwa gụa aphụ; g'unu kpụshia ishi; chịta uwe-
aphụ yee. 13 Ọle ọ bụ; leanarọ ẹnya! Ẹhu atsọle-a
unu! Unu nọdu emelẹ-a ẹmereme; egbushi eswi; egbushi
atụru; atashi anụ; angụshi mẹe! Unu -gbẹshi unu asụ:
“Unu g'anyi rikwaa nri ngụa mẹe! ?Ọ kwarọ: o -be
echele; anyi anwụhu-a?”
14 Ọle Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike mekpọoru ọwa-
a; mu maru; mu gude nchị mu nụma iya; mbụ l'ọ sụru-
a: “iphe-ẹji-a, unu eme-a bẹ a ta abyakwa asachafụ
asachafụ jasụ g'unu a-nọ-beru. Noo iphe, oopfu; mbụ
Nnajịuphu ono, bụ Chipfu; bya abụru Ọkalibe-Kakọta-
Ike.”

### *Aal*ọ Shebuna ẹka lẹ nchị

15 Waa iphe, Nnajịuphu epfu; mbụ Chipfu ono, bụ
Ọkalibe-Kakọta-Ike. Ọ sụru-a: “Tụgbua je asụ onye-
ozi ono, mbụ Shebuna, bụ iya bẹ unuphu ibe eze dụ
l'ẹka; je asụ iya: 16 ?Bụ gụnu bẹ iime l'ẹka-a? Tẹme
?bụ onye harụ ngu g'ị bya anọdu tụa ilu, ee-li ngu? Ị
bya anọdu atụ ilu ngu l'ephekerephe; egbubashi ẹka ịi-
nọduje tụta unme l'ime agbara mkpuma. 17 Lenu! Chipfu
abyaakwaa ngu azụ gburumu pfụurii; tuphakpọepho
etupha; mbụ gụbe onye ono, bụ oke-dụ-ike ono. 18 Oo-
wee ngu kperekpere gẹ bọlu je eworu ngu chie l'ọha,
kwata ha ọkpobe ọsa. Ọ bụru l'ẹka ono bẹ ịi-nọdu
nwụhu. Tẹme ọ bụru l'ẹka ono bẹ ẹguru ụgbo-ịnya ngu
ono a-kwashị; mbụ gụbe onye ono, bụ iphe, e gude achị
ụlo nnajị ngu ọchi ono! 19 Chipfu a-nashị ngu ọkwa ngu;
chịfu ngu l'ẹka ị nọ eje ozi.

[20] "O -be mbọku ono bẹ mu e-ku onye ejeru mu ozi,
bụ Ẹliyakimu nwa Hilikaya. [21] Mu achịta uwe kpowula-
kpowula ngu woru yee ya; chịta akpọ, iikebutajẹ uwe
woru mee ya mgburugburu; woru ike, shi dụ ngu nụ nụ
iya. Ọ bụru iya a-bụru nna ndu bu lẹ Jierúsalẹmu; mẹ
ndu ọnu-ụlo Jiuda. [22] Ọ bụru iya bẹ mu e-ye igodo ọnu-
ụlo Dévidi l'ẹka; ọ -gụhaa ụzo ghebe ọnu; ọ tọ dụdu
onye byaru agụ-chi iya nụ. Teke ọ gụ-chikwanuru ụzo;
ọ tọ dụdu onye byaru agụha iya nụ. [23] Mu e-me iya g'ọ
ngụru angụru gẹ nggu, a kpọberu kpọ-mia akpọ-mi. Ee-
gude iswi ẹhu iya kwabẹ ndibe nna iya ùbvù.
[24] "Iphemiphe, bụkpoo iphe, e gude akwabẹ ndibe
nna iya úbvú bẹ aa-tụko nyabẹkota iya l'olu; mbụ ndu
ẹphe l'iya bụ abụbu; mẹ ụnwu, ẹphe nwụtaru anwụta;
ngwa ụlo l'ophu, bụ ndu ọphu ẹnya lwarụ l'ibe phẹ;
e -shikpọo l'ochi jasụ l'ipoti." [25] Chipfu, bụ Ọkalibe-
Kakọta-Ike sụru-a: "Lẹ mbọku ono bẹ nggu ono, e shi
kpọbe kpọ-mia akpọ-mi ono a-kpọfu daa. Ngwa-ụlo
ono, e shi kobegbaa ya ono abụru gwoo l'alị. Nokwa olu
Chipfu."

# 23

### *Ozi, Chileke ezi ndu mkp*ụkpu Taya

[1] Waa ozi, Chileke ziru lẹ k'ẹhu mkpụkpu Taya.

Unu kwashịa ẹnya-mini; unubẹ ụgbo-mini kẹ
mkpụkpu Tashishi; kẹle mkpụkpu Taya bẹ e
mebyishiwaru. Nta-a ta adụedu ụlo, dụ iya nụ. Ọphu ọ
dụedu ọdu ụgbo-mini, dụ iya nụ. Ọ bụru ẹka e shirọ
bya emee g'ẹphe maru bụ l'alị Sayịpurosu. [2] Unu dakwaa
gbẹẹ̀ unubẹ ndu bukube eze-ẹnyimu; mẹkpoo unubẹ
ndu agba nghọ, bụ ndu shi lẹ mkpụkpu Sayịdonu. Ndu
unu ziru ozi daakwaru eze-ẹnyimu jeshia ẹka unu ziru
phẹ. [3] Ẹphe dawarụ ẹnyimu olemole. Iphe unu shi

egudeje akpa okpoga bụ witi, a kọru l'agụga ẹnyimu
Shihọ; mbụ witi ọphu a kpatarụ l'agụga ẹnyimu Nayịlu.
Mkpụkpu unu shi ẹgube ono bụru ẹka ọhamoha azụkota
aswa.
4 G'iphere bụru kẹ gụbe mkpụkpu Sayịdonu; mbụ
gụbedua, bụ onye ike dụ, bu l'eze-ẹnyimu; kẹle eze-
ẹnyimu yewaru ọnu sụ l'ime teke emeswekwaa ya; ọphu
ya nwụjekwaru nwa. Ọphu ya ehejekwaru nwa nwoke;
ọphu ya emetsejekwaru nwa nwanyị.
5 Ndu Ijiputu -nụmaepho iphe, meru lẹ Taya bẹ oo-
gburwashị phẹ ẹhu shii.
6 Unubẹ ndu bukube eze-ẹnyimu; unu daghakwaa eze-
ẹnyimu la l'azụ iya kẹ Tashishi! Unu rakwaa ẹkwa
rashịa ya ike! 7 ?Bụ mkpụkpu-a bẹ unu shi anọduje
eme ẹmereme-a? Mbụ akahụ mkpụkpu ndiche ono;
onye ọkpa iya ẹphenebo dutaru je ẹka dụ ẹnya; o je
eburu bụru onye byaru abyabya. 8 ?Bụ onye kabẹ chịaru
Taya ẹjo idzu ọwa? Mbụ mkpụkpu ono, ekpubeje ndu
ọzo okpu-eze ono; mkpụkpu, ndu agba oke-nghọ l'ime
iya bụkota ndu-ishi ndu-ishi; ndu bụepho l'ẹphe agba
nghọ bụru ndu mgboko l'ophu akwabẹ ùbvù. 9 Ọ kwa
onye chịru iya dobe g'ọ dụ nno bụ Chipfu, bụ Ọkalibe-
Kakọta-Ike; g'o gude mee g'eku-onwonye k'iphe, bụkpoo
ndu nweru akpabiri kpụa ẹpho l'alị; l'ookuzetakwaphọ
iphe, bụkpoo ndu aakwabẹ ùbvù lẹ mgboko l'ophu.
10 Unu gbawarọ alị unu ophorokpo g'ẹka ẹnyimu
Nayịlu byaru utso; unubẹ ndu Tashishi! Ọ tọ dụedu
onye nọ-chikwaduru unu ụzo. 11 Chipfu machịwaru ẹka
mabẹru eze-ẹnyimu; bya emee g'alị-eze ndu mgboko
nmakọta jiijiijii. Ọ tụwaru ekemu sụ l'ọwa-a iphe, ee-me
ndu Kénanu; g'a tụko iphe, bụkpoo ẹka e meru; ọ ngụru
angụru, dụ iya nụ mebyishikọta. 12 O pfuru sụ: "Unu tee
meẹkwa ẹmereme; unubẹ ndu Sayịdonu, bụ unubẹ ndu

ọphu e gwerụ uji nta! Unu gbalihunu daghata azụ iya
ọphuu jeshia alị Sayịpurosu. Unu -jerwukpọnu ẹka ono
bẹ unu ta abyakpọkwanu atụta unme ọbu.”
13 Unu lekpọdapho ẹnya l'alị ndu Bábilọnu; mbụ ndu
ono, adụdu iphe, a gụberu phẹ nta-a ono! Ndu Asiriya
mewaru iya; ọ bụru ẹka ụnwu anụ, shi l'echiẹgu abyajẹ
adọru. Ẹphe tsoru iya ọgu; bya eworu ụlo, a kpụshiru ike,
dụ iya nụ g'ọ ha tsukpọshia; mee ya; ọ bụru ochobu.
14 Unu raa ẹkwa rashịa ya ike; unubẹ ụgbo-mini kẹ
mkpụkpu Tashishi; kẹle mkpụkpu, unu shi dakobe bẹ e
mebyishiwaru!
15 O -rwua teke ono bẹ aa-zọha mkpụkpu Taya nọo
ụkporo apha ẹto l'apha iri, bụ iya bụ iphe, eze anọje
l'ọkwa eze iya. Ụkporo apha ẹto l'apha iri ono -bvụepho
l'ọ nwụaru ndu Taya g'ebvu ono, ndu agba ụkpara agụje
ono, sụru:
16 “Wota ogumogu tsoru ọma
mkpụkpu ghaphechaa;
gụbe nwanyị-ụkpara,
a zọharu azọha!
Kpọo ogumogu ọbu
rengurengu;
gụa ikpoto ebvu gụru
ye iya;
k'ọphu aa-nyata ngu
ọzobakwa.”
17 Lẹ-a; ụkporo apha ẹto l'apha iri ono -bvụepho bẹ
Chipfu a-bya emee ndu Taya enweru iphe ọzo. Ẹphe
alaphu azụ l'iphe ono, shi kwọwaru phẹ ẹhu ono, bụ
iya bụ agba ụkpara. Ọ bụru ndu ẹphe l'iya a-nọdu eme
iya bụ alị-eze ndiphe l'ophu. 18 Ọle urwu, oo-rita; mẹ
ụgwo, aa-pfụ iya a-bụkotaru iphe, ee-doberu Chipfu. O
too dobedu iya l'ọba; ọphu ọ dụdu ẹka ọochikobe iya.
Urwu, o ritaru abụru ndu aa-nụje iya bụ ndu nọ ndzụ

nọ-doru Chipfu; gẹ ndu ono nweru nri nweru ọkpobe uwe; nweru iya k'etsutsu iya.

# 24

*Aph*ụ, Chipfu a-nụ ndiphe l'ophu
1 Lekwa! Chipfu abyakwa eme g'eliphe l'ophu dabyiru
iphoro. Mbụ mee ya g'ọ bụru ochobu. Oo-mebyishi
iphu iya chịkashia ndu bu iya nụ. 2 Ọ bụru g'e meru
onye bụ g'ee-me onye! G'e meru ndu-uke bụ g'ee-me nemadzụ mmanụ. G'e meru nnajị bụ g'ee-me ohu. G'e meru ne nwe ụlo bụ g'ee-me nwamgbọko, ejeru iya ozi. G'e meru onye ere erere bụ g'ee-me onye azụ azụzu. G'e meru onye jeru ejita ụgwo bụ g'ee-me onye jieru ụgwo. G'e meru onye jeru ejita ụgwo oke ntụkwase bụ g'ee-me
onye ejie oke ntụkwase. 3 Eliphe l'ophu bẹ ee-me g'ọ
dabyikọtakporu iphoro; mbụ mebyishikọtakpoo ya g'ọ ha. Ọ kwa Chipfu pfuru opfu-a l'onwiya.
4 Eliphe l'ophu agbanwụshihu agbanwụshihu anwụ lwaalwaa anwụlwashihu. Mgboko l'ophu nọdu atahụ atahụ anwụkwapho lwaa. Iphe, bụ ndu eekutse l'eliphe
nọdu atahụkotakwapho atahụ. 5 Ọ kwa ndu nọ lẹ
mgboko pharwụru mgboko; kẹle ẹphe jịkaru eme iphe, ekemu pfuru; bya agbanwee iphe, a sụru g'e meje; bya
emebyia ọgbandzu ojejoje onoya. 6 Noo g'o gude ọnu,
Chileke tụru nọdu ere phuruphuru lẹ mgboko. Ọ bụru ndu bu iya nụ e-vuta ọnwu iya. Ọo ya bụ lẹ ndu bu lẹ mgboko bẹ e kepyashịkotawaru. Ọphu nwa ndu ọphu
phọduru nụ abaẹdu ishi. 7 Mẹe ọ̀phúú tashịhuru. Vayịnu
ata mẹe nwụkota lwaa. Iphe, bụ ndu eme rigbarigba tsụahaa pfụpfupfu.
8 Ẹguru ọda nkwa ono, ẹphe akụ ono bụru bugemu. Wọowoowoo, ndu angụ-sweshi onwophẹ iphu atụ bụru sụtukumu. Ogumogu ono, shi atsọ ịkpoki ono daa

nyọnyoronyo. [9] Ọphu ẹphe abụjeeduru; ẹphe -nọdu
angụ mẹe; ẹphe agụ ebvu-mẹe eye iya. Mẹe, atsụ
atsụtsu nọdu atsọwa ndu angụ iya nụ ilu. [10] Mkpụkpu
ọla-l'iswi ono dabyiwaru ophorokpo. Ụlo onyemonye bẹ
a gụ-chishichaaru agụ-chishi g'ọ tọ dụ onye a-bahụ iya
nụ. [11] Ẹphe wụshiru lẹ gbororo ara g'a nụ phẹ mẹe
g'ẹphe ngụa. Ẹhu-ụtso l'ophu tụko gbahụkota ọchii.
Ọphu ete ẹswa adụedu l'eliphe mgburugburu. [12] A haa
mkpụkpu ono; ọ bụru ikpọzu. E woru ọguzo, e shi
yee ya gbua pyaapyaa. [13] Noo g'ọo-dụ l'eliphe l'ophu
bụ ono. Nokwaphọ g'ọo-dụru ọhamoha. Ọo-dụ g'ẹka
a nmarụ oshi olivu yigayiga; ọzoo gẹ nwantụkantuka
akpụru vayịnu, phọduru l'ẹka a wọru vayịnu.

[14] Ẹphe e-mechaa wolia olu tụa ụzu; mbụ tụa ụzu
ẹhu-ụtso. Ẹphe eshirọ l'ụzo ẹnyanwu-adada tụta ọnu
gẹ Chipfu paberu ẹka. [15] Ọo ya bụ gẹ ndu nọ l'ụzo
ẹnyanwu-awawa jaa Chipfu ajaja. Gẹ ndu bukube eze-
ẹnyimu tukwaapho Chipfu ono, bụ Chileke kẹ ndu
Ízurẹlu ẹpha! [16] Anyi nọdu anụro ebvu, a -gbẹ l'ẹka
igwe beru alị beru agụ, asụje: “G'ajaja bụru k'onye ono,
pfụberekoto ono!”

Mbẹdua sụkwanu: “Mu wụfuakwaru! Mu
wụfuakwaru! Nshịokwa mu nshịo! Ndu oderu-oye
edeakwaru amadụ eye! Ẹphe gudeakwa ẹregede ederu
amadụ eye!” [17] Nggiri; yẹe nsụkutu; mẹkpoo igbudu
tụkokwaru kwabẹru unubẹ ụnwu-eliphe! [18] Onye
nụmaru ụkporo nggiri -gbalaaha l'o je adalahụ lẹ
nsụkutu. Onye -shikwanụ lẹ nsụkutu nyifuta; igbudu
atụpyabe iya. Ụzo-mini ụzo-mini, nọkota l'igwe
ghekọtawaru ọnu. Ọkpa-ụlo mgboko l'ophu nọdu
angakọta anganga. [19] Mgboko l'ophu gbawashịhuwaru
agbawashịhu. Mbụ lẹ mgboko gbajahawaru ẹbo.
Mgboko aphụwaa kpakpakpa aphụshi iya ike. [20] Mgboko

l'ophu angaakwaa phuphuphu g'onye mẹe l'atsụ. Ọotu kpekengu kpekengu g'ụlo, bvuru l'ẹka oke phẹrephere ezi. Mbụ l'ẹjo-iphe, o meshiru bẹ ikpe iya nmarụ iya nmashia ya ike; k'ọphu bụ l'ọo-da darwua alị; ọphu ọogbalihubaedu.
[21] O -rwua mbọku ono bẹ Chipfu a-hụ̀ ndu nọ
l'ephekerephe ahụ̀hù k'iphe-ẹji, ẹphe nọ l'ẹka dụ
ephekerephe mee; hụ̀kwapho ndu eze, nọ l'eliphe
ahụ̀hù kwaphọ. [22] Ee-rwukọbe phẹ l'ẹka lanụ g'onye
rwukọberu ndu mkpọro l'ọka-mkpọro. L'a tụ-chia phẹ
l'ọka-mkpọro ọbu parụ haa. A -nọepho ujiku olemole
l'e je ahụ̀a phẹ ahụ̀hù. [23] Noo teke iphere a-dụ ọnwa;
l'e meru ujikputeru nụ ẹnyanwu. Noo kẹle Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike a-bụru eze l'eli úbvú Zayọnu yẹfua lẹ Jierúsalẹmu. O je l'egoshi ndu bụ ọgerenya mkpụkpu ọdu-biribiri iya.

# 25

*Etu Chipfu* ẹpha
[1] Gụbe Chipfu;
ọ bụ ngu bụ Chileke mu.
Mu a-nọdu ekutse ngu;
eku ẹpha ngu gude aja
ngu ajaja.
Noo kẹle i mewaru iphe,
dụ biribiri.
Ịipfushije ike l'iphe,
ị chịru idzu iya e -shi
teke ndiche;
[2] kẹle i mewaru mkpụkpu;
ọ bụru ikpọzu;
mbụ mee mkpụkpu,
a kpụ-pheru igbulọ

mgburugburu;
ọ bụru ọla-l'iswi.
Ẹka ndu ọhozo kpụru;
ọ ngụru angụru bẹ i mewaru;
ọ bụru ẹka mkpụkpu
adụedu;
ọphu a byadu emezibaa
ya jasụ l'ojejoje.
3 Noo g'o gude ọha ike dụ je
a-nọdu akwabẹ ngu
ùbvù.
Ndu mkpụkpu ono,
ndu bu iya nụ bụ ndu
ewebushi akụrepho ono
a-tụko wata ngu eyeru
nsọ.
4 Ọ kwa ngu shikpọo eshinu
bụru onye ndu adụdu
g'ọ dụ phẹ anọduje l'ẹka
ezeru ndzụ.
Mbụ l'ị bụ onye abụjeeru;
iphe -nọdu atsụ nemadzụ
l'ẹhu l'ọ gbaba ngu l'ime
je anọdu zeeru ndzụ.
Ọ bụru ngu bẹ aagbabajẹ
l'ime je anọnyabe mẹ
oke phẹrephere nọdu ezi;
mbụ l'ọo ngu bụ ìbvù
onye okpomọku ekpo;
kẹle mkpawere ndu
ewebushi akụrepho
dụ g'ẹka oke
phẹrephere eme g'o

nwutsua igbulọ;
5 bya adụkwapho
g'okpomọku, ekpo l'alị,
mini adụdu.
Ọ bụ ngu emeje gẹ ndu
ọhozo,
atụ kwokwokwo dobe
ọnu doo.
Ọo g'ìbvù, shi l'urwukpu
atuzetajẹ okpomọku-a
bụ g'ịibyanyije erwu
úbvù ndu ewebushi
akụrepho.

*Nri* ọbo-iphe, Chipfu e-shiru ndibe iya

6 Ọo l'eli úbvú-a bẹ Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike a-
nọdu kua ndiphe l'ophu oku iphe-eriri, tsụru ẹba; gaarụ
phẹ mẹe ndiche; mbụ shiaru phẹ anụ, bụ anụ, ụmi
jiru ejiji; yẹe mẹe, doru ẹrwu. 7 Ọzo bụ l'ọo l'eli úbvú-
a bẹ ọo-nọdu mebyishia phulaphula ẹkwa ono, e gude
phukputechaa ọhamoha ono; mbụ ukpo ono, e gude
phụ-chia ọha l'ophu onoya. 8 L'o mebyia ọnwu lwụa ya
ree jasụ l'ojejoje. Mbụ lẹ Nnajịuphu, bụ Chipfu l'e-
hushi onyemonye ẹnya-mini l'ẹnya. Iphe-iphere ono, e
shi eme ndibe iya ono bẹ oo-me g'ọ bvụkota l'eliphe
mgburugburu; kẹle ọo iphe ono bẹ Chipfu pfuru.
9 O -rwua mbọku ono bẹ ẹphe a-sụ: "Lenu! Ọ
kpọkwaa Chileke anyi baa. Anyi kpọru obu yeru iya; ọ
dzọo anyi. Onye-a bụ Chipfu; anyi kpọru obu yeru iya.
G'ẹhu tsọo anyi! G'anyi teje ẹswa l'ọ dzọru anyi!"

*Aphụ*, Chipfu a-nụ ndu Mówabu

10 Kẹle ẹka Chipfu a-dụkwa l'eli úbvú-a. Mbụ lẹ
ndu Mówabu bẹ aa-zọ tọlitoli l'ibe phẹ ẹgube ono,

aazọje ẹswa ekperema pyakapyaka l'ikpọzu ono. [11] Ẹphe
a-chịru ẹka labọ tụkaa g'onye ebvu mini, tụkaru ẹka
l'eli mini ebvu mini onoya. Tẹme l'ọ bya emee g'eku
onwophẹ ono lwa phẹ alị; g'ẹphe amahabe ẹrengete
iya. [12] Ọo-byazeta phengarangu igbulọ ono, unu kpụru;
ọ ngụru angụru ono. Oo-me iya l'ọodukpoo mkpulalị
ọkpobe adụdu; mbụ l'oo-wozetakpọ ya alị ọkpobe
ewozeta; mbụ worwua ya alị gẹdegede kpọ.

# 26

*Ebvu Ajaja*

[1] O -rwua mbọku ono; waa ebvu,
aa-gụ l'alị ndu Jiuda baa:
"Anyi nweru mkpụkpu,
shihuru ike.
Ọ bụru ndzọta bẹ Chileke
gude kpụ-phee ya
mgburugburu g'igbụlo."
[2] Unu gụhaa ụzo mkpụkpu
ono ghebe ọnu;
k'ọphu ọha ono,
pfụberekoto ono,
bụ ndu apfụshije ike l'iphe,
ẹphe pfuru ono abahụ.
[3] Ii-kebe iya l'ọma; mbụ onye ono,
uche iya dụ l'ẹka ị nọ;
opfu l'ọ kpọru obu yeru
ngu ono.
[4] Unu kpọru obu yeru Chipfu
jasụ lẹ tuutuutuu lẹ mịimiimii;
kẹle Nnajịoha,
bụ Chipfu bụ oke agbara
mkpuma ojejoje.

5 Ndu woliru onwophẹ eli
bẹ o kuzetaru;
bya emee gẹ mkpụkpu, a kpụru;
ọ ha ephekerephe
ephekerephe lwazetakpọ
mkpulalị;
mbụ l'o gwerụ iya
pyakapyaka jasụ o rwua alị;
o woru iya gwọo
l'urwuku.
6 E gude ọkpa azọ iya tọlitoli;
mbụ ọkpa ndu e shi
emekpa ẹhu;
mbụ ntụ-ọkpa ndu adụdu
g'ọ dụ phẹ.
7 Ụzo, ndu pfụberekoto
eshi pfụru nhamụnha.
Sụ-a; gụbe onye obu gụru
ìphóró;
ọo ngu meru ụzo ndu
pfụberekoto;
ọ nọdu akwọ tẹretere.
8 Gụbe Chipfu;
anyi nọkpoepho eme iphe,
ekemu ngu pfuru;
gude nno daa gbẹe
ngabẹru ngu.
Ẹpha ngu;
yẹe ẹngiringa ngu bụ iphe,
adụje anyi ree l'obu.
9 Oghoroko ngu adụje mu
l'ẹnyashi.
O -be l'ụtsu l'ọ dụkwa mu phọ

g'asụ lẹ mu hụmaru
ngu.
Teke i kpeẹrupho
ụnwu-eliphe ikpe;
ndu bu iya nụ amaru iphe,
bụ apfụbekoto.
10 Ndu ẹjo-iphe abụjeru;
e -mechakpọoru phẹ
eze-iphe-ọma;
ẹphe ta anwụtadu iphe,
bụ apfụbekoto.
Ẹphe -nọduchakponu l'alị
ndu obu phẹ gụru ìphóró;
ẹphe emelẹ-a iphe,
bụ iphe, apfụduru-ọto.
Ẹphe ta akpadu ishi kẹle
Chipfu parụ ẹka.
11 Gụbe Chipfu;
ị paliwaru ẹka ephekerephe;
obenu l'ẹphe ta ahụmaduru
iya.
G'ẹphe hụmanu g'opfu-ẹhu
ndibe ngu aphụ-beru
ngu l'ẹhu;
g'iphere adụ phẹ!
G'ọku, dụru ndu ọhogu ngu
tsupyashịkwaa phẹ!
12 Gụbe Chipfu;
ọ bụ ngu e-me gẹ nchị
dụ anyi doo.
Iphe, bụkpoo iphemiphe,
anyi meru bụkota ngu
bẹ meru iya nụ anyi.

13 Gụbe Chipfu, bụ Chileke anyi;
ndu bụ nnajịịuphu ọzo,
abụdu gụbedua shiakwa
bụru nnajịịuphu anyi.
Obenu l'ọo gụbedua kpoloko
bẹ anyi akwabẹ ùbvù.
14 Ndu k'ono nwụhuakwaru;
ẹphe ta anọekwa ndzụ.
Ndu maa, lashịịwaru nụ;
ta alwajeẹkwa azụ.
Ị hụ̀ru phẹ ahụ̀hù; mee phẹ;
ẹphe bụru ọla-l'iswi;
bya emee phẹ g'a ta
nyatajẹhe phẹ anyata ophu.
15 I mewaru ndu ndu-anyi;
ẹphe ka igwerigwe;
gụbe Chipfu.
I mewaru ndu ndu-anyi;
ẹphe ka igwerigwe.
I shi ẹgube ono mee
onwongu;
a kwabẹahaa ngu ùbvù;
gụbe onye kpọribecharu
oke alị ono l'ophu.
16 Mbụ-a Chipfu;
ọ kwa ngu bẹ ẹphe
gbapfutaru teke iphe atsụ
phẹ l'ẹhu.
Teke ịihù phẹ ahụ̀hù bẹ ẹphe
tụkoru wata ngu araku.
17 Ọo gẹ nwanyị, dụ ime;
ime nọdu emewaa iya;
anọduje aswịkposhi onwiya;

echi mkpu l'oome iya ẹhuka-a;
noo g'anyi shi dụ nọdu
ngu l'iphu; gụbe Chipfu.
18 Anyi shi dụ ime;
anyi nọdu aswịkposhi
onwanyi l'ẹka oome
anyi ẹhuka.
E mechaa; ọ dụ g'anyi nwụru
phẹrephere;
mbụ l'anyi ta adụdu ike
dzọta ụnwu-eliphe;
ọphu ndu buchiru mgboko
adadụru.
19 Sụ-a; ndibe ngu,
nwụhuru anwụhu
e-mechakwaa nọdu
ndzụ ọzo.
Ogwẹhu phẹ e-teta gbalihu.
Unubẹ ndu bu l'ime urwuku;
unu gbalihu rwua okwe
ẹhu-ụtso.
Iji, akwaru unu dụkwa g'iji,
akwa lẹ nchi-abọhu.
Mgboko e-mechakwaa
chịfutagbua ndu shi
nwụhuhawa nụ,
dụ iya l'ime.

### *Adzọ* ndu Ízurẹlu ndzụ

20 Ndu mu; unu tụgbua bahụ l'ụlo unu je agụ-chia
onwunu ụzo! Unu domia onwunu nwanshịi; jasụ oke
ẹhu-eghu iya adazeta; 21 kẹle-a; unu lenu! Chipfu shiakwa
ẹka o bu eje afụta; g'ọ bya ahụ̀a ndiphe ahụ̀hù k'iphe-ẹji,

ẹphe meru. Mgboko l'ophu e-kpofutakọta ndu e gburu l'ime iya; ọphu oodomiẹdu ndu a nọ iya l'ime phụshia.

# 27

1 O -rwua mbọku ono bẹ Chipfu e-gude ogu-echi, aha gengugengu. Ogu-echi, parụ ẹka bya adụ ike bẹ oo-gude hụ̀a ẹjo-oke-agiyi ono ahụ̀hù; mbụ ọkpu-wuruwuru ono, bụ agwọ; ẹjo-oke-agiyi ono, bụ iya bụ nwọswi nggẹgeringge agwọ ono; mbụ l'ẹjo anụ, bugbaa lẹ mini bẹ ọo-phụshichaa tẹterii.
2 O -rwua mbọku ono bẹ Chipfu e-pfu sụ: "Unu gụa ebvu nụ opfu-vayịnu ono, eye mebyi ntụmatu ono.
3 Ọ kwa mụbe Chipfu eleta iya ẹnya. Mu agba iya mini mkpụrumkpuru. Mu nọdu eche iya nche eswe l'ẹnyashi; g'ọ tọ dụ onye e-mebyi iya nụ. 4 Ẹhu te eghujekwa mu eghu. Ọ -bụkwanuru l'e woru obvu obvu yẹe mkpọ mkpọ tọ-chishia mu ụzo; mu azọo ya ọkpa ghata mẹ a -nọdu l'iphu ọgu; chịru phẹ ye l'ọku g'ọku kee. 5 Ọdumeka; g'ẹphe gbapfutaẹle mu-a bya anọdu mu l'ẹka zee ndzụ. G'ẹphe byalẹ-a gẹ mu l'ẹphe doshia; g'opfu ta adụheru mu l'ẹphe."
6 E -mechaa l'ụzo iphu; bẹ oshilọkpa Jiékọpu e-mechaa gbaa ọgbarabvu. Mbụ lẹ ndu Ízurẹlu e-mechaa tụa ige; phọo ishi; mịa amịmi gude mebyi mị-jia mgboko l'ophu.
7 Mbụ-a; iphe, Chipfu chiru iya; ?ọ hakpọwanu g'ọphu o chiru ndu chiru iya iphe? ?E gbubekpọwaru iya nụ g'e gburu ndu gburu iya nụ? 8 Iphe, o gude baarụ iya mba bụ l'ọ harụ; e tsoo ya ọgu kpụa ya lẹ ndzụ; mbụ ọ bụru ẹjo phẹrephere, shi l'ụzo ẹnyanwu-awawa bẹ o gude bya agụ-lia ya. 9 Wakwa g'ee-gude byachia ikpe, nmarụ oshilọkpa Jiékọpu baa; tẹme ọ bụkwaru iya phọ a-bụru mebyi, ọ mịru, bụ iya bụ l'ee-huchafụ iphe-ẹji iya: Teke oo-gwe mkpuma ẹnya agwa iya rwukuru-rwukuru

g'onye egwe ńdzú. Itso Ashera taa dụedu; ọphu ẹnya ẹka aakpọje ụ̀nwụ̀-isẹnsu ọku adụedu ọphu apfụkwaduru nụ.
10 Noo kẹle mkpụkpu, a kpụshiru ike dabyiwaru iphoro. Ọ bụru ochobu ẹgu mbukọbe; bụru ẹka a gbadoru g'echiẹgu, adụdu onye bu iya nụ. Ọ bụru ẹka ono bẹ aanọduje eche eswi; bya abụru ẹka aadọbeje iya; ọ nọdu ata ẹkali-oshi, dụ iya nụ l'ọoburu ẹchachi.
11 Teke ẹkali iya ono kpọhuru nkụ l'eegbushia ya. Ụnwanyi abya evuta iya jeye l'ọku; kẹle ndu-a bụ ndu enwedu egomunggo. Ọ bụru iphe ono meru g'o gude ọphu imemini phẹ adụdu onye meru phẹ nụ; mbụ ọphu ọ dụdu iphe-ọma, oo-meru phẹ mẹ ililekpọo.
12 O -rwua mbọku ono bẹ Chipfu e-shiẹpho l'ọnu ẹnyimu Yufurétisu tụtukoo ndibe iya g'onye atụtushi ẹswa l'ereshi; gbiriri jasụ lẹ nggele Ijiputu. Mbụ l'unubẹ
ndu Ízurẹlu bẹ aa-nọdu atụtukọbe nanụnanu. 13 Mbọku
ono bẹ ee-gbu eze opu. Ndu ono, nọ l'alị ndu Asiriya ala l'iswi ono; mẹ ndu ọphu a kpụru lẹ ndzụ laa alị ndu Ijiputu; a-tụko lwakọbe bya abaaharụ Chipfu ẹja l'úbvú, dụ nsọ ono, nọ lẹ Jierúsalẹmu onoya.

# 28

*Aph*ụ atsọru ndu Ifuremu

1 Nshịo mkpụkpu Samériya, bụ okpu-eze ono, ndu Ifuremu gude eku onwophẹ ono; gude iya angụghajeru mẹe ẹka ono! Nshịo ẹguru okoko ono, anwawa anwanwa ono; mbụ okoko, bụ iya bụ ẹguru iya; bya abụru ogbunwịinwii ya ono, a tụ-koberu l'ishi nsụda, emehuje iphe ono! Nshịo mkpụkpu ono, ẹphe egudeje eku onwophẹ; mbụ ndu mẹe kwatsuru ono! 2 Lenu;
Nnajịuphu nwekwarụ onye ọkpehu dụ shii; tẹme o shihu ike. Ọo-gbalikpọe ya phọ byia l'alị kẹ gbaa; g'ẹka a tụru

akamini; g'ẹka oke phẹrephere mebyishiru iphe; g'ẹka
igwe ezi phẹrephere; edze oke mini, asọ gborogboro.
3 Okpu-eze ono, ndu Ifuremu gude eku onwophẹ ono;
gude iya angụghajeru mẹe ẹka ono bẹ ee-gude ọkpa tee
pyakapyaka. 4 Okoko ono, anwawa anwanwa ono; mbụ
okoko, bụ iya bụ ẹguru iya bya abụru ogbunwịinwii ya
ono, a tụ-koberu l'ishi nsụda, emehuje iphe ono; l'a-dụ
g'akpụru oshi figu, chakeru achake. Ahụma, nemadzụ
ahụma iya; bya awọtawa iya parụ l'ẹka; bụwaa g'ọ wata
iya eriri.

5 O -rwua mbọku ono bẹ Chipfu, bụ Ọkalibe-kakọta-
ike a-bụru okpu-eze, egbu nwịinwii; bya abụru okpu,
l'eme phẹ g'ẹphe dụ ùbvù l'ẹnya; mbụ nwa ndibe iya
ọphu a kpụ-phodoru lẹ ndzụ. 6 Sụ-a; ọo Chileke l'a-bụru
onye a-nọdu eyeru onye-ikpe ẹka g'o kpee ikpe, pfuru
ọto; l'ọ bụru iya a-bụru onye angẹje ndu alwụ ọgu ike
g'ẹphe nwufu ndu ọhogu phẹ ọnu-ọguzo mkpụkpu.

*Ndu uke y*ẹle ndu mpfuchiru Chileke, ngụnukaru mẹe

7 Ndu ọwa akpọkwapho kulakula mẹe; tẹme ẹphe
gudewaa angụ mẹe, shihuru ike dakashịhu. Sụ-a; ndu-
uke Chileke ẹphe lẹ ndu mpfuchiru Chileke ngụakwaru
mẹe, shihuru ike; akpọ kulakula. Mẹe riakwaru phẹ
ishi. Ẹphe ngụru mẹe, shihuru ike akpọ kulakula.
Ẹphe nọdu anọduje akpọ garịgari m'ẹphe nọdu aphụ
ọphulenya. Ẹphe -nọdu epfu iphe, ee-me; ẹphe ep-
fusweshi iya epfusweshi. 8 Iphe, bụkpoo teburu g'ọ ha
bẹ ẹphe gbọkotaru ẹgbo kpua; k'ọphu bụ l'ọ tọ dụdu
ẹka akpọduru iya idzu.

9 “?Bụ onye bẹ oome g'o zia iphe? ?Bụ onye bẹ oome
g'iphe, oozi doo ẹnya? ?Bụ ụnwegirima nshịi, aamịfu
ọnu l'ẹra tọo; mbụ ndu bụ-wokwadu-a bẹ a nafụru phẹ
ẹra. 10 Kẹle ọ kwa ekemu bẹ e woru tụ-kobe l'ekemu;

mbụ l'ekemu tụ-koru l'eli ekemu. A bya akaa iphe l'eli iphe, a karụ iphe; kaa iphe l'eli iphe, a karụ iphe. E metọta l'ẹka-a; metọta l'ẹka phọ.”
11 Ọ kwa onye epfu l'ọnu-ọku yẹe onye epfu opfu-alị
ndu ọzo bẹ Chileke e-gude pfuru opfu nụ ndu-a; 12 mbụ
ndu ono, ọ sụru: “Ẹka-a bụ ọkpoku atụta unme; gẹ ndu ike bvụru nọdukwa iya tụta unme. Tẹme ẹka-a bụru ẹka atụta unme.” Ọphu ẹphe angadụruro nchị. 13 Ọo ya bụ
l'opfu, Chipfu epfu eyeru phẹ a-bụru ekemu bẹ e woru tụ-kobe l'ekemu; mbụ l'ekemu tụ-koru l'eli ekemu. A bya akaa iphe l'eli iphe, a karụ iphe; kaa iphe l'eli iphe, a karụ iphe. E metọta l'ẹka-a; metọta l'ẹka phọ; k'ọphu ẹphe e-jekwanụ adaa ịdaphu-azụ; meka iphe; dalahụ l'ọ́nyà; l'aanmata phẹ.

*Mkpuma, gude* ụlo, a tọgboru l'úbvú Zayọnu

14 Ọo ya bụ; unu nụmakwa opfu, Chipfu epfu anụ unubẹ ndu mgbọnu! Mbụ unubẹ ndu ono, bụ ndu-ishi lẹ Jierúsalẹmu ono! 15 Unu anọduje epfu
ọkpu-ọnu ọkpu-ọnu sụ: “Anyi l'anwụhu gbaakwaru ndzụ; mbụ l'anyi l'alị-maa yeakwaru ẹka l'ẹkwo. Teke Ochi-gbaagbaa ono, e-dzuru ẹkameka ono rwuru bẹ ọ tọ dụkwa iphe, oo-me anyi; kẹle ọo adzụ ụka bẹ anyi meru; ọ bụru iphe, anyi egudeje ezeru ndzụ; ụghoshi l'onwiya bụru ẹka anyi ejeje je edomia onwanyi.” 16 Wakwanụ iphe, Nnajịụphu, bụ Chipfu pfuru
baa: “Lekwa; mu tọgboakwaru mkpuma l'úbvú Zayọnu; mkpuma, a hụwaru ama; bya abụru mkpuma, vu oke aswa; mkpuma, e doberu l'ishi ẹka o gude ọkpa-ụlo gudeshia ya ike; k'ọphu bụ l'onye dakoberu iya nụ ta abyadụ anga anganga. 17 Ọo ikpe, pfụru ọto bẹ ya e-
me oshi ọnyeka. Ọ bụru apfụbekoto a-bụru iphe, e gude eme g'ọ pfụru nhamụnha.”

Ọ bụru akamini e-kpota iphe ọbu, unu gude ezeru ndzụ ọbu; mbụ adzụ ụka. Mini abya asọpyabe ẹka ono, unu ejeje je edomia onwunu ono.
[18] Ọgbandzu unu l'anwụhu bẹ tee vuẹduru ire. Ọphu ẹ́ká, unu l'alị-maa yeru l'ẹkwo apfụeduru. Teke o-chi-gbaagbaa ono, e-dzuru ẹkameka ono rwuru; l'oochita unu tọgbo.
[19] Ọ tọ dụkpodaa teke ọ bya; ọphu o zikọta unu. Ụtsu g'ụtsu; eswe l'ẹnyashi bẹ ọo-byajẹ bya ezia zighata. Mbụ l'onye-ozi-a doru ẹnya bụkwa ndzụ e-rwuta iya.
[20] Kẹle iphe-azẹe taa sụedu nemadzụ azẹe lọchia onwiya alọchi. Ukpo apaa gbẹrere k'ọphu ọ tọ sụedu nemadzụ aphụ onwiya.
[21] Noo kẹle Chipfu a-gbalihu g'ọ gbalihuru l'eli úbvú Perazimu. Ẹhu eghuahaa ya eghu g'o ghuru iya lẹ nsụda Gibiyọnu. Noo teke oo-je ozi iya; jee ya g'o to jejehaadaru iya; mbụ mee ụngara nkiya g'o to mejehaadaru iya.

[22] Nta-a bụ lẹ-a; unu hakwa agba mgbọnu; ọdumeka bẹ ee-mekwa g'ẹgbirigba unu kabaa unu anyị ẹrwa. Ọ kwa Nnajịịuphu; mbụ Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike bẹ pfuru mu sụ mu l'a tụ-buwaru l'ee-mebyishi alị-a l'ophu.

### *Mmamiphe Chileke*

[23] Unu ngabẹ nchị nụma olu mu! Unu gebekpọdapho nụma iphe, mu epfu!
[24] Teke onye akọje opfu akọshi ẹka ọo-nma iphe; ?ọonoduje akọepho ọkoro nno eje tọo? ?Bụ iphe, ọonodujeepho eme bụ egbukpọshi bẹ ọonodujeepho egbukọshi alị akpa iya ẹja eje tọo?
[25] Ọ -kọchaa ya kpasaa ya; ọ dụ ree; ?tọo ghajẹdu iya akpụru dilu; ghaa akpụru kọminu; kụa ya witi l'ẹka rwuberu iya nụ; ghaa balị l'ibiya ọphu a karụ iphe; bya aghaa ereshi-supélutu l'okoke alị iya ọbu?
[26] Ọ bụru Chileke iya anọduje egoshi iya iphe, oo-me; bya abụkwaru iya phọ anọduje ezi iya iphe, bụ: o -mee ya; l'ọ bụru

ọkpobe iya. 27 E tee gudejekwa mgbọrígwè, eegudeje
echi ereshi echishi akpụru dilu. Ọphu eegudejedu ọgba-
kperekpere-nzọshi-iphe ewephe l'eli kọminu. Akpụru
dilu bụ oshi bẹ eegudeje echishi iya. Ọ bụru mgbọro
bẹ eegudeje echishi kọminu. 28 ? Eegwepyashije witi
egwepyashi tọo? Waawakwa. E te egwejedu iya ngwe
lanụ. Ọobujeru; e -wechaa ya ọgba-kperekpere-nzọshi-
iphe; l'ọ phụshia ya ẹswa; ọle o too gwepyakwanu iya
egwepya. 29 Iphemiphe ono bụkotaru onye o shi l'ẹka bụ
Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike. Iphe, ọotu-beje k'ememe
dụ biribiri; mmamiphe iya bẹ pakwarụ ẹka.

# 29

*Nsh*ịo mkpụkpu Jierúsalẹmu

1 Nshịo Ariyẹlu; gụbe Ariyẹlu; mbụ mkpụkpu ono,
Dévidi shi buru ono! Unu gụru apha ye l'apha. Unu bọo
ọbo-iphe bọgbabe mgburugburu. 2 Obenu lẹ Ariyẹlu bẹ
mu e-me g'o jee iphe-ẹhuka. Ọo-gụ aphụ kwashịa ẹnya-
mini. Ọo-dụe mu phọ g'ẹka aakpọje ngwẹja ọku l'ọru-
ngwẹja. 3 Mu e-keru ngu ọgu kephee ngu mgburugburu;
woru ose-ọgu buphee ngu mgburugburu. 4 Ee-wozekpọ
ngu alị k'ọphu ịi-nọdu l'alị aka gberegbere. Olu ngu eshi
l'alị adafụta nwiphiphe. Mbụ l'ịi-nọdu l'alị epfu nwa
họhoho gẹ nwamaa. Ọ bụru l'alị bẹ ịi-zẹ; olu ngu ọbu
ada nwa rwịirwiirwii.

5 Ndu ọhogu ngu, dụkpoo igwerigwe bẹ ee-gwe uji
g'urwuku, dụ nukuru nukuru. L'e mee igwerigwe ndibe
ngu, ewebushi akụrepho; ẹphe etsu dududu g'ẹswa
ereshi. Teke ono teke ono; mbụ a -bya amaru; 6 bẹ Chipfu,
bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike e-me phẹreketeke. Ọ -nọdu abya
l'ọ tụ egbigwe; alị anma jiijiijii; ẹkameka aphụ tititi;
oke phẹrephere ezi; oke mini edze; ọku, anọdu enwu
phoophoophoo; ekepyashi iphemiphe. 7 Noo teke ikpoto

ọha, a-nọdu etso Ariyẹlu ọgu a-wụfuta; ẹphe etsoo ya
ọgu; mẹkpoo ụlo, a kpụshiru ike, dụ iya nụ; nọ-phee ya
mgburugburu. Ọ -nọdu eme l'ọ dụ iya gẹ nrwọ; g'ọ bụ
ọphulenya bẹ ọophu l'ẹnyashi. 8 Ọo-dụ g'ẹka onye ẹgu
agụ rwọru nrwọ gẹ ya eri nri; o tehushia; ẹgu nọdu agụ
iya rọ l'ẹka ọogu iya; g'ẹka onye ẹgu-mini agụ rwọru
nrwọ ẹka ya angụ mini; o tehushia; ẹkpiri kpọhukwa iya
phọ nkụ g'ọ kpọhuru iya; kẹle mini ọbu agụle iya phọ
g'ọogu iya. Noo g'ọo-dụ ikpoto ọha l'ophu, etso úbvú
Zayọnu ọgu bụ ono.

*Iphe, e-me ndu ta angaduru Chileke nchị*

9 G'ọ tụfukwaa unu ẹhu! G'ọ dụkwa unu biribiri!
Unu watakwa atsụ ishi! Unu ba aphụhekwa ụzo! Gẹ
mẹe, unu angụduru watakwa unu atsụtsu! Unu awata
akpọ garịgari l'ẹbe unu angụ mẹe, shihuru ike! 10 Chipfu
meakwaru g'oke mgbẹnya tụ unu. O kechiakwaru unu
ẹnya; unubẹ ndu mpfuchiru Chileke; o kpuchiwaa unu
ishi; unubẹ ndu aphụ ọphulenya. 11 Ọphulenya-a l'ophu
ta adụkwa iphe, ọ bụ unu. Ọ dụ-a unu g'opfu, e pfuru
dee ya l'ẹkwo woru nyachia. Teke i wokwanụru ẹkwo
ọbu nụ onye maru agụ ẹkwo bya asụ iya g'ọ nggẹ gụa
jiko; iphe, oo-pfu bụ lẹ ya taa dụkwa ike agụ iya. L'a
nyachikwaru iya anyachi. 12 Ọzoo l'i woru ẹkwo ọbu nụ
onye amadụ agụgu bya asụ iya: "Nggẹnu gụa jiko." Iphe,
oo-pfuru ngu bụ: "Mu ta amakwa g'aagụje ẹkwo."

13 Sụ-a; wakwa iphe, Nnajịụphu epfu baa: "Ndu-a
bụepho epfupfu bẹ ẹphe epfujeru mu l'ẹphe nọ mu ntse.
Ọ bụru eli ọnu bẹ ẹphe gude akwabẹ mu ùbvù. Obenu
l'obu phẹ nọgbaa mu ụzenya. Ebvu, ẹphe atsụ mu bụ
iphe, ẹphe gude eme iya bụ ekemu, nemadzụ tụru. 14 Ọo
ya bụ lẹ-a; mgbo lanụfua bẹ mu e-mefụ-a ndu-a iphe, a-
dụ phẹ ebvu l'ẹnya. Mu e-me iphe, dụ biribiri tụ-kobe

l'iphe, dụ biribiri. Mmamiphe ndu maru iphe bẹ a-la l'iswi. Nkwamẹnya ndu iphe edoje ẹnya edomia onwiya edomi."

*Ele* ẹnya l'iphu a-ka ree

15 Nshịo unubẹ ndu ono, ejeje l'ẹka dụ omilomi je edomia iphe, ẹphe chịru idzu ememe; domia ya gẹ Chipfu ta ahụma iya; ndu anọduje l'ọchii eme iphe, ẹphe eme arịro sụ: "?Bụro onye hụmaru anyi? ?Bụro onye a-maru iphe anyi eme?"
16 Unu ewojeru iphe gha ịgharaphu g'onye arị l'ọ-kpụ-ite a-dụ g'ụrwa, o gude akpụ ite. ?Ọ dụru teke iphe, e gude ẹka mee a-sụ onye meru iya nụ: "Ọ tọ bụkwa ngu meru mu?" ?Ọ dụru teke ite a-sụ ọ-kpụ-ite: "Ọ tọ dụkwa iphe, ị maru g'eeme?"

17 Ọ tọ dụkwa g'ọo-nọ-beru l'e woru úbvú úbvú Lébanọnu mee g'ọ bụru alị, iphe emehuje; alị, iphe emehuje abya ezee dụ g'ọswa.

18 O -be mbọku ono bẹ ndu ada nkụchi a-nụmachaa opfu, e deru l'ẹkwo ono. Ndu atsụ ishi ahụmachaa iphe l'ime ọchii, gbaru tsụkiribaa.
19 Ndu wozeru onwophẹ alị bẹ a-nọdu l'ẹka Chipfu ẹhu atsọ phẹ ụtso. Mbụ lẹ ndu adụdu g'ọ dụ phẹ a-nọdu l'ime Onye Nsọ kẹ ndu Ízurẹlu ete ẹswa.
20 Ndu ewebushi akụrepho a-chịhu; ndu mgbọnu taa dụedu; ndu nweru ẹnya eme ẹjo-iphe l'eenwutsushikọta phẹ g'ẹphe ha;
21 mbụ ndu egudeje ọnu mee g'ikpe nmaa nemadzụ l'iphe, iswi dụ iya mma; woru ọ́nyà gbaaru onye agbaru nemadzụ ọdzori l'ụlo-ikpe; gbaa ekebe ụgho jasụ l'e woru ikpe nma onye iswi dụ mma.

22 Ọo ya bụ lẹ-a; wakwa iphe, oopfu anụ ọnu-ụlo Jiékọpu; mbụ Chipfu ono, bụ iya gbafụtaru Ébiri-hamu ono. Ọ sụru-a: "Iphere taa adụekwa oshilọkpa Jiékọpu ọzo; ọphu iphu agbachihuẹdu phẹ agbachihu

ọzo. 23 Teke ẹphe a-hụma ụnwegirima, mu a-nụ phẹ bẹ
ẹphe e-dobe-a ẹpha mu nsọ. Ẹphe ekwetakwaphọ l'onye
nsọ k'oshilọkpa Jiékọpu bẹ dụ nsọ eviya. Ẹphe anmahụ
pyaapyaapyaa l'iphu Chileke kẹ ndu Ízurẹlu. 24 Ndu te
ebvuduru ebvuru l'iphe kẹ Chileke abụru ndu iphe edoje
ẹnya. Ndu agụ-phe aphụ ekwe mee iphe, a sụru g'ẹphe
mee."

# 30

Ọgbandzu, enwedu ishi

1 Wakwa iphe, Chipfu epfu baa: "Nshịo unubẹ ụnwu
ono, bụ ndu ẹjo-ọkpoma; mbụ ndu anọduje eme iphe,
abụdu idzu mu; ndu ẹphe l'ibe phẹ achịje idzu atụgba
bụru nanụ; ọle ẹphe te egudekwanu Unme nkemu eme
iya; ndu eme iphe-ẹji akụbe l'eli iphe-ẹji; 2 ndu wụfuru
lashịa alị ndu Ijiputu l'ẹbe epfuru mu iya; ndu bụ Fero
bẹ ẹphe ele ẹnya l'ẹka g'o yeru phẹ ẹka gbobuta phẹ
g'ọ tọ dụ iphe, e-me phẹ nụ; ndu gbapfuru ndu Ijiputu
je anọdu phẹ l'ẹka ezeru ndzụ. 3 Ọle egbobuta, Fero a-
nọdu egbobuta unu bẹ iphere iya e-mechaa dụ unu; mbụ
l'ẹka ndu Ijiputu, unu gbabarụ; e-mechakwana tee unu
ntụ l'iphu. 4 A makwarụ-a lẹ ndu-a bẹ ndu-ishi phẹ
nọwa lẹ mkpụkpu Zowanu; mbụ lẹ ndu ẹphe ziru ozi
byarwutawaru mkpụkpu Hanẹsu. 5 Ọle onyemonye bẹ
ee-mekọta g'ẹphe bụru ndu iphere dụ. Ọ bụru iphe, a-
kpa iya nụ bụ ndu ono, adụdu iphe, ẹphe gude phẹ eme
ono; ndu te eyedụru phẹ ẹka; ọphu ẹphe abadụru phẹ
urwu. Ọ bụerupho iphe-iphere yẹe iphe ata ụta bẹ ẹphe
a-bụru phẹ."

6 Ọwaa bụ ozi, Chileke ezi lẹ k'ẹhu ụnwu anụ, nọ
l'echiẹgu ndọhali: "Ndu ono, e ziru ozi ono wụru je aghaa
alị iphe-ẹhuka yẹe mkpawere; alị, oke oduma; yẹe ne
oduma bugbaa; ẹka ọkpontu; yẹe ẹjo agwọ ọzo bugbaa;

mbụ l'ẹphe vu ẹku phẹ l'okpurukpu nkapfụ-ịgara; bya
evuru iphe, vu oke-aswa phẹ l'okpurukpu ịnya-kamẹlu;
evujeru ọha, ta abadụru phẹ urwu; 7 mbụ evujeru ndu
Ijiputu l'ẹbe abụ lẹ n-yemẹka phẹ dụru urwu, ọobaru
phẹ. Noo g'o gude ya kua ndu Ijiputu ‘Eze-oke-agiyi Ọ-
nọ-kẹ-mmanụ’.”

### *Ndu kwefuru ike*

8 “Jekwa ebyiaru phẹ iphe-a, mụbe Chipfu epfu-
a l'okwekpu; mbụ dekwaa ya edede l'ẹkwo-aphụphu;
k'ọphu abụkwanuru; o -rwua l'iphu; l'ọ bụru iphe-ekebe,
a-nọ jasụ l'ojejoje. 9 Lẹ ndu-a bụkwa ndu kwefuru
ike; bya abụru ụnwu ẹregede; mbụ ụnwegirima, o too
hedu ihee angabẹ nchị l'ọkwa, Chipfu anmarụ phẹ.
10 Ẹphe nọdu asụje ndu ọphulenya: ‘Unu ta aphụhekwa
ọphulenya ọzobaa!’ Bya asụ ndu mpfuchiru Chileke:
‘Unu te ekpuhajẹekwaru anyi iphe, gbaru anyi l'ememe!
Unu pfujeru anyi iphe, atsọ ụtso anụma! Unu gbebejeru
anyi mpfuchiru egbebe! 11 Unu haarụ anyi ụzo! Unu
gbẹshiru anyi l'ụzo! Unu ba byahẹ anyi l'iphu! Unu te
epfuhẹru anyi kẹ Onye Nsọ kẹ ndu Ízurẹlu!’ ”

12 Ọo ya bụ lẹ-a; wakwanụ iphe, oopfu; mbụ Onye
Nsọ kẹ ndu Ízurẹlu: “Eshinu unu jịkaru anụma ozi, mu
ziru unu; bya asụ l'ọo mkpawere bẹ unu a-chịru ụpfu
kwẹe; bya akpọru obu ye l'ẹregede; 13 bẹ iphe-ẹji ono
a-bụru unu igbulọ, ha ephekerephe, gbaru ọru; tẹme ọ
nọdu ada adada; g'ejia epfua; ọ dawanu teke ono teke ono.
14 Ọo-kụkposhihu g'onye kụkposhiru ite-ụrwa; tụkaa ya
nanụnanu ẹhuka ẹhuka; k'ọphu bụ l'ibiribe iya bẹ a taa
hụmadu g'ọ ka mma l'ọo mkpebahụ iya g'e gude gụta
ọku l'ovokọku; ọzokwanu g'e gude kwọta mini l'obvu-
mini.”

15 Wakwa iphe, oopfu baa; mbụ Nnajịuphu, bụ Chipfu,
bya abụru Onye Nsọ kẹ ndu Ízurẹlu: “Izimanụ -lwa
unu azụ; unu daa ngabẹru mu; l'a dzọta unu. Unu
-dakpọepho gbẹdemu bya adakobe mu; ike adụ unu.
Obenu l'ọ tọ dụdu iphe ono, dụru ọphu unu meru. 16 Ọ
bụchia iphe, unu pfuru bụ waawaa; l'unu e-nyikotachia
ịnya gude gbala. Ọ bụru iphe ono meru g'o gude unu je
l'agbala. Tẹme unu sụkwapho l'unu a-nọdu l'ịnya ọkpa-
ẹgwa gude agbala. Ọo ya bụ lẹ ndu a-nọdu achị unu
ọso ọbu a-bụkwarupho ndu ọkpa-ẹgwa. 17 Ụnu ụmadzu
labọ l'ụkporo ụmadzu iri etsukahụje gbala mẹ onye lanụ
yee unu ebvu. Teke a dụ ise yee unu ebvu; unu atụko
g'unu ha zelihu gbalaa jasụ nwa ndu a-phọdu l'echilabọ
unu adụwa gẹ nwa itso, bvuru lẹ mkpakpọnu eze úbvú;
mbụ gẹ nwa ẹkwa, akụ pẹepee l'eli úbvú.” 18 Ọle ọo-
nọdulekwa-a agụ Chipfu g'o meeru unu eze-iphe-ọma.
Ọo-gbalihulẹ-a phụaru unu obu-imemini; kẹle Chipfu
bụ Chileke, ekpeje ikpe, pfụru nhamụnha. Ẹhu-ụtso bẹ
a gọru nụ iphe, bụkpoo ndu pfụru echeru iya nụ.

### *Iphe-*ọma, Chileke e-meru ndibe iya

19 Sụ-a; unubẹ ndu Zayọnu; mbụ unubẹ ndu bu lẹ
Jierúsalẹmu; unu a-kwata ẹkwa gberuma. Oo-mekwarụ
unu eze-iphe-ọma; mẹ unu raa ẹkwa raku iya! Ọo ẹpho
anụma, ọonuma iya; l'ọ za unu ẹnu. 20 Nnajịuphu -
nụkponu unu nri mkpọnwu-ẹhu; bya echebe unu mini
eje iphe-ẹhuka; e tee domiẹduru unu ndu ezi unu iphe;
unu egude ẹnya unu gẹdegede hụma phẹ. 21 ? Unu
shiru ẹkutara-o; unu shiru ẹkicha-o; iphe, nchị unu a-
nọduepho anụ l'azụ unu a-bụru: “Wakwa ụzo baa! Unu
tsokwaru iya!” 22 Noo teke unu a-tụrwu nshi unu ono,
a wụru mkpọla-ọchaa ono. Unu atụrwukwapho ntẹkpe
unu ono, e gude mkpọla-ododo wụa ono. Unu eworu

phẹ tuphashia g'onye etupha nkịrika-ẹkwa bya asụ phẹ:
“Unu gbarụ ẹka laa!” 23 Noo teke Chileke a-wata edzeru
unu mini; edze iya ekpu l'iphe, unu meberu l'alị. Nri,
aakọta l'alị emehuaha emehu; bya adụkwapho shii. Noo
teke iphe-edobe unu a-wata akpa ntụsaru-ẹhu. 24 Eswi
unu; mẹkpoo nkapfụ-ịgara unu, bụ ọphu ejeru unu
ozi ẹgu l'a-nọdu ata nri, a gwọ-phuberu agwọ-phube;
pyashichaa ya únú; ọ bụru agọ-ézé yẹe shọvelu bẹ e
gude gwọ-phube iya. 25 Teke o rwuru mbọku ono, ee-gbu
nemadzụ pyaapyaa ono; mbụ teke ono, ọje-ephekerephe
e-zeshihụkota ono; bẹ mini a-wata asọ gborogboro gẹ
nggele; shigbaa l'úbvú, ha l'eli asọshihu; shikwaphọ lẹ
mkpogiji ọphu habe nwahabe asọshihukwapho. 26 Ọnwa
a-wata egbu nwịinwii g'ẹnyanwu; anwụ akabaa echishi
ike eme lẹ g'oochi nta-a ugbo ẹsaa; mbụ l'ọo-nọdu
echibe g'anwụ chiru ujiku ẹsaa l'ophu l'ophu; teke Chipfu
e-pfubechaa iphe l'ẹka o mekarụ ndibe iya iphe; bya
emee g'ọ́nyá, o yeru phẹ kpọhukota.

### *Aph*ụ, Chileke a-nụ ndu Asiriya

27 Unu lenu; Chipfu shi l'ẹka dụ ẹnya abya. Ẹhu-eghu
iya nọdu enwu phuruphuru g'ọku; tẹme ọ nọdu akpụ
tụutuutuu g'ẹnwuru-ọku. Ogbogboromọnu iya bụ iphe,
jiru iya nụ bụ oke-ẹhu-eghu. Tẹme ire iya bụru ọku,
enwu phoophoophoo. 28 Unme, ọotu atụtu dụ gẹ mini,
asọ gborogboro, byaru kụlakula bya awọru nemadzụ
l'olu. Ọhamoha bẹ ọonmaje yigayiga; mbụ chịru phẹ
ye lẹ n-yọ ọla-l'iswi. Ọ bya eworu ịyagba-ịnya woru ye
ndiphe l'asha g'o duphua phẹ. 29 Noo teke unu awata agụ
ebvu g'aagụje l'ẹnyashi mbọku, unu abọ ọbo-iphe, dụ
nsọ. Ẹhu atsọshikpoo unu ụtso ike gẹ ndu egbu opu eje
l'úbvú kẹ Chipfu; mbụ agbara-mkpuma kẹ ndu Ízurẹlu.

30 Chipfu emekwa gẹ nemadzụ nụma g'olu iya dụ-
be akpabiri; mekwaphọ g'ẹphe hụma ọkpehu iya l'ẹka
ooje alwa l'alị l'ẹka ẹhu-eghu iya enwu phuruphuru;
tẹme o gude ọku, enwu phoophoophoo; bya edzekwaphọ
oke mini, atụ aka-mini. 31 Olu Chipfu l'a-chịkashi ndu
Asiriya nanụnanu. Oo-gude mgbọro-eze iya chịtachaa
phẹ tọgbo. 32 Teke Chipfu gude oshi-mpalẹka iya ono, o
gude anụ phẹ aphụ ono chia phẹ gbaa; ebvu aswọshihu;
mbụ ebvu, aakụ nkwa eye; bya akpọ ogumogu eye iya;
teke ono, ọo-nọdu etso phẹ ọgu echi phẹ ẹka gbaagbaa
ono. 33 Noo kẹle Tofẹtu shihawaa lẹ ndiche dụ. E
doziwaru iya kwabẹru eze. Nsụkutu ọku, dụ iya nụ
bẹ e mewaru; ọ dụ omilomi bya adụ ọsa. Ọku yẹle
nkụ kwatakpọoru paa ya ẹka. Unme, Chipfu tụru sọru
gborogboro g'ọku nshị-egbe sọbata iya bya emee ya; ọ
gbanwuhu ọku nwuahaa phoophoophoo.

# 31

## Ọshi, ayọru ndu kpọru obu yeru ndu Ijiputu

1 Nshịo unubẹ ndu ono, agba ala alị ndu Ijiputu eje
achọ n-yemẹka; ndu daphuberu ịnya; bya akpọru obu
yeru ikpoto ụgbo-ịnya, ẹphe nweru; yẹe oke ọkpehu dụ
ndu ojọgu phẹ, bụ ndu egudeje ịnya eje ọgu; ọphu ẹphe
adabẹduru ẹnya l'ẹka Onye nsọ kẹ ndu Ízurẹlu nọ; mbụ
ọphu ẹphe agbapfuduru Chipfu g'o yeru phẹ ẹka. 2 Ọle ọ
bụ; yẹbedua l'onwiya bụkwaa onye maru iphe. Ọ nọdu
ewotajeru nemadzụ ọla-l'iswi; ọphu oopfujedu opfu laa
azụ azụ. Ọo-gbalihu tsoo ibe ndu ẹjo-iphe ọgu; mẹkpoo
ndu anọduje eyeru ndu eme ẹjo-ememe ẹka. 3 Obenu lẹ
ndu Ijiputu bụ nemadzụ; ẹphe ta abụdu Chileke. Ịnya
phẹ bẹ bụ anụ-ẹhu; ọ tọ bụdu maa. Chipfu -machịwaa
ẹka bẹ ụpfu a-dụ-a onye eye ẹka. Onye eeyeru ẹka adaa
gwoo. Ẹphenebo atụko laa l'ite lanụ.

4 Wakwa iphe, Chipfu pfuru nụ mu baa: “Ọo g'oduma
asụje ekiri; mbụ g'oke-oduma asụje ekiri mẹ o -gbua
iphe, oo-ri; m'obetakpọo e kua ikpoto ndu eche atụru;
ẹphe tụko dzukọo g'ẹphe tsoo ya ọgu; mkpu, ẹphe tụko
echi te emekpọdanu gẹ ndzụ gụa ya; ọphu ụzu, ẹphe
atụ akpọshidu iya iphe, oome-a. Noo gẹ Chipfu, bụ
Ọkalibe-Kakọta-Ike e-nyizeta bya alwụa ọgu l'eli úbvú
Zayọnu; mẹkpoo lẹ mkpakpọnu úbvú ono. 5 Chipfu, bụ
Ọkalibe-Kakọta-Ike e-kpuchita Jierúsalẹmu g'ẹnu, ephe
l'eli. Oo-kpuchi iya; tẹme l'ọ nafụtakwa iya phọ; agbaru
iya ọdzori, agbaru iya mkpu; g'ọ tọ dụ iphe, e-me iya
nụ.”
6 “Sụ-a; unubẹ ndu Ízurẹlu; unu lwaphutanụ azụ
lwapfuta onye ono, unu kwefuru ike ono; 7 kẹle o -rwụa
mbọku ono bẹ onyemonye lẹ g'unu ha e-mechakwaa jịka
nshi mkpọla-ọchaa ono; yẹe kẹ mkpọla-ododo ono, unu
gude ẹka iphe-ẹji unu mee ono. 8 Ndu Asiriya bẹ ee-gude
ogu-echi, abụdu k'amadụ gude gbushia; mbụ ọ bụru
ogu-echi, abụdu kẹ nemadzụ mmanụ bẹ ee-gude gbufu
phẹ. Ẹphe a-gba ọso gbalaaru ogu-echi ono; l'a chịru
ụnwokorobya phẹ ye l'ozi mkpọnwu-ẹhu. 9 Agbarike
phẹ a-dakọta; ẹka eeye phẹ ebvu. Ndu-ishi ndu ojọgu
phẹ -hụmaepho g'ọgu ọbu eje ala; ẹphe agbado ẹkwa-
ọhubama phẹ phọta ọso gbalachaa.” Noo iphe, Chipfu
pfuru bụ onoya; mbụ onye ono, kpọberu ọku l'úbvú
Zayọnu; bya azụbe ọta pfụpfupfu ọku lẹ Jierúsalẹmu
ono.

# 32

*Onye eze, pf*ụberekoto

1 Unu lenu; o nweru eze, abyanụ a-bụru eze,
pfụberekoto. Ndu-ishi iya abụru ndu ekpe ikpe, pfụru
nhamụnha. 2 Onyemonye a-dụ g'ẹka edomi onwonye,

a nọ agbalarụ phẹrephere; dụkwapho g'ẹka aanọduje
ezeru ndzụ l'ẹka oke-mini edze; dụkwapho gẹ nggele,
asọ l'alị, mini adụdu; dụkwapho g'onyonyo oke agbara
mkpuma, nọ l'alị, adụdu iphe, dụ iya nụ. 3 Noo teke e tee
meẹdu gẹ ndu aphụ ụzo phụ-buhu ụzo. Tẹme ndu anụ
iphe lẹ nchị awata anga nchị. 4 Ndu iphe adụje ẹgwegwa
e nweru egomunggo. Ndu epfu l'ọnu-ọku epfuahaa opfu
gbururu; pfuahaa iphe, doru ẹnya. 5 E tee kuhẹdu onye-
eswe onye a maru ẹpha iya. Ọphu akwabẹedu ẹjo
nemadzụ oke ùbvù; 6 kẹle onye-eswe epfuje mkpọkoro-
opfu. Egomunggo iya bụepho ẹjo-iphe bẹ ọonoduje arị.
Iphe, ọonoduje eme ememe bụru umere onye agụbeduru
Chileke iphe. Tẹme ọ nọdu anọduje ezi ẹjo-nzi l'opfu
ẹhu Chipfu. Ndu ẹgu agụ bẹ ọohaje; ẹphe adabyiru
iphoro. O to kejedu ndu ẹgu-mini agụ mini. 7 Umere
k'onye ẹjo nemadzụ bụkwaru ẹjo-iphe. Iphe, ọochije
idzu ememe bụkota ẹjo-ememe; g'o gude ntuphu-ire
mebyishia ndu akpa nri; mbụkpoo m'obetaru ndu ono,
adụdu g'ọ dụ phẹ ono nọdu eyekpọo ọnu, pfụru ọto.
8 Obenu l'onye a maru ẹpha iya achịje idzu, a maru ẹpha
iya. Ọ bụru iphe, a maru ẹpha iya, oomeje bẹ oogudeje
pfụru pfụshia ike.

## Ụnwada Jierúsalẹmu

9 Unubẹ ụnwanyi ono, nọ tụsaru ẹhu; unu gbalihu
ngabẹru mu nchị! Unubẹ ụnwada ono, arị l'ọ tọ dụdu
iphe, abya unu ememe ono; unu nụmakpodapho iphe,
mu abya epfupfu! 10 A -nọepho apha ophu; tụ-kobe iya
iphe, ha nwanshịi bẹ unubẹ ndu ono, arị l'ọ tọ dụdu
iphe, abya unu ememe ono a-wata anma jiijiijii. Vayịnu
ta adụedu mebyi, ọo-mịta. Ọ tọ dụedu iphe, aawọta
l'oshi-ọmi ililekpọo. 11 G'ẹhu nmakwaa unu anmanma;
unubẹ ụnwanyi, nọ tụsaru ẹhu! G'ẹhu tekwaa unu

kparịkpari; unubẹ ụnwada ono, arị l'ọ tọ dụdu iphe,
abya unu ememe ono! Unu tọfukwa ẹkwa unu; chịta
uwe-aphụ gbaphua onwunu l'upfu! 12 Unu phukwaru yoo
l'opfu ẹhu ẹgu ono, dụ ùbvù l'ẹnya ono; mẹ kẹ vayịnu
ono, amịje shii ono; 13 mẹ k'alị ndibe mu l'ophu; mbụ
alị, bụ iphe, rwuchiru iya nụ bụ obvu yẹe ẹwu-óbvú.
Ee-o! Unu watakwa agụ aphụ l'opfu ẹhu iphe, bụkpoo
ụlo, aanọduje abọ iphe; mẹ k'ẹhu mkpụkpu-a, aanọduje
eme ẹmereme-a! 14 Noo kẹle unuphu ibe eze ono bẹ
ee-mechaa gbado. Mkpụkpu ono, aatụ wọowoowoo
ono adabyiru iphoro. Úbvú Ofẹlu; yẹe ụlo, a kpụshiru
ike, dụ iya nụ a-bụru ochobu jasụru; bụru ẹka dụ
nkapfụ-ịgara-ọswa ree; yẹe ẹka eeche eghu mẹ atụru;
15 gbiriri jasụ teke ee-shi l'eli wụa anyi unme Chileke
l'ẹhu. Noo teke ee-woru echiẹgu mee alị, iphe a-nọdu
emehuje; alị ẹka iphe emehuje abya ezee dụ g'ọswa.
16 Ee-kpeahaa ikpe, pfụru nhamụnha l'echiẹgu; haahaa
enge, pfụru ọto l'alị, emehuje iphe, a kọru iya. 17 Mebyi,
apfụbekoto a-mị bụ lẹ nchị a-dụ doo. Iphe, e-goshi
l'a pfụberekoto abụru l'ẹkameka a-da nyọnyoronyo; meji
anmapfuru onyemonye jasụ l'ojejoje. 18 Tẹme ndibe mu
eburu l'unuphu ẹka nchị a-dụ phẹ doo; l'unuphu, adụdu
iphe, byaru eme phẹ nụ; l'ẹka ẹphe a-nọdu atụta unme;
ọ tọ dụdu iphe, akpọ-byi phẹ iya nụ. 19 Mbụ l'igwe a-tụ
akamini gude tụpyashia oke ọswa; tụpyashia mkpụkpu
ono l'ophu l'ophu. 20 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ unubẹ ndu
ono, akụ iphe, unu akụ akụku l'ẹka mini dụ; mbụ unubẹ
ndu harụ eswi unu; yẹe nkapfụ-ịgara unu; ẹphe nọdu
akpa ntụsaru-ẹhu.

# 33

1 Nshịo gụbe nwa mmebyi; l'ẹbe abụ l'o nweru onye
mebyiru gụbedua! Nshịo gụbe nwoderu-oye; l'ẹbe abụ

l'ọ dụru onye deru ngu ye! Ọ kwa: ị -haẹpho emebyishi; l'e mebyia gụbedua. Teke ị haẹrupho ederu nemadzụ ye; l'e deru gụbedua ye.

2 Gụbe Chipfu; menaarụ anyi eze-iphe-ọma! Anyi
pfụkwaru echeru ngu. Bụjenuru ike anyi l'ụtsu mbọku-
mbọku. L'ị bụru onye ndzọta anyi; mẹ anyi nọdu
l'iphe-ẹhuka. 3 Ọobujeru; olu ngu -daẹpho g'egbigwe;
ndiphe agbalacha. Teke i kwolihuru ekwolihu; ọhamoha
agbakashịhu. 4 A kwaa phẹ ọkwata rwukọo phẹ g'ẹka
ịnyarinya erwu ẹkwo; mbụ gbaa phẹ gorogoro g'ẹka
igube wụbaru.

5 Chipfu bẹ goshiru l'ọ parụ ẹka; noo kẹle o bu
l'ephekerephe. Úbvú Zayọnu bẹ oo-me g'ọ bụru iphe,
e-ji iya nụ bụ ikpe, pfụru nhamụnha; yẹe apfụbekoto.
6 Ọo ya a-bụru onye e-me g'unu ngụru angụru l'ọgbo
k'unu. L'ọ dzọta unu ọkpobe adzọta; mee g'unu maru
iphe; kwaa ẹnya. Ọ bụru atsụ Chipfu ebvu a-bụru ẹku
k'unu.

7 Lewarọ; ndibe phẹ, bụ ndu ọkpehu dụ l'echikwa
mkpu l'ọma gbororo. Ndu ẹphe ziru ozi, bụ ndu byaru
g'e doshia opfu nọdu akwa ntụmatu. 8 Eze gbororo bẹ
a gbadoakwaru; ọphu ọ dụedu ndu ije, eshijekwadụ iya
nụ. Ẹphe mebyiwarụ ọgbandzu, ẹphe gbaru; ọphu
ọ dụedu iphe, a gụberu ndu ekebe. Ọphu ọ dụedu
onye aakwabẹjekwadu ùbvù. 9 Alị-a nọdu agụ aphụ
edideshihu edideshihu. Iphere dụ ọswa, nọ l'úbvú úbvú
Lébanọnu; ọ nọdu anwụlwashihu anwụlwashihu. Nsụda
Sharọnu dụepho g'echiẹgu ẹka mini adụdu. Tẹme oshi,
nọgbaa l'alị Beshanu; yẹle úbvú Kamẹlu nọdu alaẹpho
ẹkwo kparakpara.

## Ọkwa, Chipfu anmarụ ndu ọhogu iya

10 Chipfu bya eyee ọnu sụ: “Ọo nta-a bẹ mu a-gbalihu
agbalihu! Ọo nta-a bẹ mu e-goshi lẹ mu parụ ẹka! 11 Unu
dụ ime ẹswa ọkponku; ọ bụru oshi ereshi bẹ unu a-nwụ.
Unme, unu atụ bụru iya bụ ọku, e-ke unu. 12 Ọzo bụ lẹ
ndu ono bẹ a-dụepho gẹ mkpuma layịmu, a kpọru ọku;
mbụ l'ọo g'e gbushije irwu obvu kụbe tsẹe ya ọku-a bụ
g'ẹphe e-tsu gburugburu tsufu. 13 Unubẹ ndu bu ụzenya;
unu nụmakwa iphe, mu meru! Unubẹ ndu ọphu bu ntse;
g'o donaa unu ẹnya l'ọkpehu dụ mu!”
14 Ndu iphe-ẹji, bu l'eli úbvú Zayọnu bẹ ndzụ-agụgu
rwutaakwaru. Ndu ta adụdu iphe, ẹphe gụberu Chileke
nọdu aphụwaa kpaakpaakpaa epfu sụ: “?Bụ onye ole
lẹ g'anyi ha bẹ yẹe ọku, enwu enwunwu e-buru? ?Bụ
onye ole lẹ g'anyi ha bẹ yẹe oku, etsu ojejoje e-buru?”
15 Ọ kwa onye bụ onye emeje iphe, pfụru ọto; tẹme ọ
nọdu epfuje iphe, pfụru nhamụnha; onye ajịkaje anata
urwu, shi l'iphe, a natarụ l'ike; tẹme ọ nọdu eselajẹ ẹka
azụ l'anata ụphalazu; onye ta angabẹjedu nchị mẹ a -
nọdu achị idzu g'ee-shi gburu ọchi; tẹme ọphu ọosajedu
ẹnya hụma iphe, bụ ẹjo-iphe. 16 Noo ẹgube onye a-nọdu
l'ephekerephe. Ọ bụru ẹka oo-buru zee ndzụ bụ l'ụlo, a
kpụshiru ike l'eli úbvú. Ẹka ono bẹ aa-nọdu anụ iya nri.
Ọphu ọ dụdu teke ọ byaru achọ mini achọcho.

*G'iphe a-d*ụ-be ree l'iphu

17 Gụbedua e-gude ẹnya ngu hụma onye eze ono g'ọ
dụ-be ùbvù l'ẹnya; bya amaa ẹnya l'alị ono, nọru ogologo
ono. 18 L'ị bya egude ọriri ngu bya alaphu azụ l'akahụ
nggiri ono. Mbụ l'ị rịa sụ: “?Bụnaa awe bẹ onye ono,
shi edeje okpoga-akịriko ono nọhunu? ?Bụhunu awe
bẹ onye ọphu e shi apfụjeru ego ọbu nụ nọ? Mbụ ?
bụnaa awe bẹ onye ọphu shi agụ ụlo-mgbobuta anyi
ọgu nọnaa?” 19 Ị tịi hụmabaedu ndu ono, shi eku

onwophẹ ono ẹnya ahụma ophu; mbụ ndu ono, opfu
phẹ egbejeru egberu ono. Ndu atsụ ntsụ; ọphu iphe,
ẹphe epfu edojedu ẹnya. [20] Lenaa ẹnya lẹ Zayọnu; mbụ
mkpụkpu ono, anyi anọduje abọ ọbo-iphe anyi ono! Ii-
gudewarọ ẹnya ngu hụma Jierúsalẹmu; mbụ mkpụkpu
ono, bụ: i -buru iya; nchị adụ ngu doo ono; bya adụ
g'ụlo, e meru l'ẹkwa, adụdu onye byaru aphọriberu iya
aphọriberu; ọphu ọ dụdu onye adụ ike aphọ-lita itso
iya aphọ-lita. Ọphu ọ dụkwapho eri iya ọphu byaru
agbabuhu agbabuhu. [21] L'ẹka ono bẹ Chipfu a-bụru
Ọnyibe k'anyi. Ẹka ono a-dụ g'ẹka nggele dụ ọsa;
ẹnyimu dụ iya ọsa. Ọphu ọ dụdu ụnwu ụgbo-mini,
nweru akwọ-ụgbo, byaru eshi iya nụ. Ọphu ọ dụkwapho
oke ụgbo-mini, a byaru anga l'eli iya. [22] Noo kẹle ọo
Chipfu bụ onye-ikpe k'anyi. Mbụ l'ọo Chipfu l'atụru anyi
iphe, anyi a-nọdu eme. Tẹme ọ bụru Chipfu bụ onye
eze k'anyi. Ọo ya bụ onye a-dzọta anyi. [23] Eri, e shi kee
gụbe ụgbo tọshihuakwaru. Oshi, gụbe ụgbo gude ngụru
angụru dụchaakwaa wogowogo. Ọphu ẹkwa-ụgbo ngu
adabyiẹkwaru pọtoo. Ọo ya bụ l'aa-kwa ọkwata, parụ
ẹka kee; mbụ lẹ ndu ẹniyeni a-kwachaa ọkwata. [24] Ọphu
ọ dụedu onye bu lẹ Zayọnu a-sụ: “Iphe emekwa mu.”
Tẹme iphe-ẹji ndu bu l'ẹka ono meru bẹ aa-gụkotaru
phẹ nvụ.

# 34

*Aph*ụ, Chileke a-nụ ndu ọhogu iya

[1] Unu kpịritaru ntse; unubẹ ọhamoha; unu bya
anụmakpodapho! Unu ngabẹkpodapho nchị; unubẹ
ndiphe! G'eliphe l'ophu nụmakwa; iphemiphe, nọ iya
nụ anụma! Gẹ mgboko nụma; iphemiphe, shi iya
nụ anụma! [2] Chipfu bẹ avụkwaru ọhamoha ọvuma.
Oke ẹhu-eghu iya bẹ ọ tụ-koshiakwaru ndu ojọgu phẹ

l'ophu. Oo-mebyishikọtakwa phẹ g'ẹphe hakọtakpoo
rengurengu. Oo-woru phẹ haa g'e gbushia. [3] Ndu
nkephẹ, e gburu egbugbu bẹ aa-pajẹru tuphaa etupha.
Odzu phẹ awata eshi ishi; mee phẹ atụko úbvú úbvú
swọngaa. [4] L'aphụ akpaminigwe g'onye phụru utute.
Kpokpode atụko adashịhu l'alị g'ẹka ẹkwo vayịnu,
nwụru lwaa erishihu l'eri iya; mbụ g'akpụru oshi figu,
nọ l'oshi figu gbanwụshihuru agbanwụshihu dashịhu.

[5] Ogu-echi mu bẹ a nọkwa l'imigwe baa bata nkọ.
Lekwa; a paakwaa ya apazeta gude abya anụ ndu Edọmu
aphụ; mbụ ndu ono, bụ ndu mu dochawaru edocha
k'emebyishikọta rengurengu ono. [6] Ogu-echi Chipfu bẹ
mee a-ngụgukwa angụgu. Iphe, e-ji iya nụ bụkwa ẹba-
iphe. Mee ụnwu-atụru; yẹe mee eghu; waa ẹba-iphe, shi
l'àkpụ̀rù ebili adụchaa ya. Noo kẹle Chipfu abya egwe
ngwẹja lẹ mkpụkpu Bọzura; iphe, ee-gbu egbugbu paa
ẹka l'alị ndu Edọmu. [7] Atsụ bẹ aa-tụko ẹphe l'ẹphe
gbushikọta; mẹkpoo oke-eswi ndu ọphu ha nwanshịi;
mẹ ndu ọphu parụ ẹka. Alị phẹ bẹ mee a-nọdu asọ
gborogboro; l'eegude ẹba-iphe gwọo urwuku l'ọoburu
ẹpuchi. [8] Noo kẹle Chipfu nweru eswe agwata ụgwo iphe;
bya enweru apha, ẹjo-iphe onye meru a-vọ iya l'ẹhu;
g'ooshi nno gbaaru ndu bu lẹ Zayọnu ọdzori.

[9] Nggele nggele, nọkota l'alị ndu Edọmu a-wọkota
korota. Ẹja, dụ l'alị ono awọkota ọku-nshị-egbe. Alị ẹka
ono l'ophu abụkotaru korota, ọku enwu taphutaphu. [10] Ọ
tọ byadu anyịhu anyịhu eswe l'ẹnyashi; ẹnwuru iya akpụ
tụutuutuu jasụ l'ojejoje. L'ọ bụru ochobu dabyiru nno
shi l'ọgbo sweru ọgbo. Ọ tọ dụdu onye byaru eshibaa
ya ghatakpọnu aghata ọzobaa. [11] Ọkpo-ngwere yẹe ebyi
esweta iya l'ọ bụru iphe phẹ; mbụ lẹ mgbashị-ujiku
yẹe okpoko-ọ́hà akpashị ẹpfune l'ẹka ono. Chileke e-
me alị ndu Edọmu g'ọ dụ g'o shi dụ teke o meru eliphe

k'ọ̀phúú lẹ mbụlembu. 12 Ndu oke amadụ phẹ ta adụedu
ẹka ẹphe enwekwaduru, bụ ẹka eekuje alị-eze. Ndu-ishi
iya g'ẹphe ha a-chịhukota. 13 Ẹwu-óbvú erwuchia l'ụlo-
eli, dụ iya nụ. Ole-karara yẹe ẹgbara atụko ụlo iya, a
kpụshiru ike zechia. Iphe, a-nọdu akpa iya ụri abụru
nkụta-ọswa. Mgbashị-ujiku eworu iya mee ibe phẹ.
14 Ụnwu anụ, bu l'echiẹgu ẹphe l'achị-anmabu atụko
edzudagbaa l'ẹka ono. Eghu-ọswa araku ibe iya l'ọra. Ọ
bụru l'ẹka ono bẹ mgbashị-ujiku anọdukwapho atụta
unme. Ọ bụru l'ẹka ono bẹ ẹphe achọtaru onwophẹ
ẹka ẹphe a-nọdu atụta unme. 15 Mgbashị-ujiku a-kpa
ẹpfune l'ẹka ono nọdu tụshia ẹkwa. L'o kpua ya; vụa
nọdu l'ẹka ono kpupyabẹ phẹ lẹ ǹkù iya hee hetseshia.
Ọ bụkwarupho ẹka ono bẹ égbé e-dzukwaphọ okee lẹ
nyee.

16 Unu jenụ elee ẹnya l'ẹkwo Opfu Chipfu; unu agụa
ya agụgu. Ụnwu iphe ono ta adụkwa mẹ nanụ adụ-
phodo l'ẹka ono. Ọphu ọ dụkwa ọphu byaru asụ lẹ ya
ta ahụmaduru okee ọzoo nyee ya; kẹle ọ kwa mbẹdua
tụru ekemu sụ l'onoo g'ọo-dụ bụ ono. Tẹme ọ bụru
Unme mu a-nọdu erwukọbe phẹ l'ẹka lanụ. 17 Ọo ya
atụje g'ọo-dụru phẹ. Ọ nọdu egudeje ẹka iya tụa ya
atụtu kee. O je abụru nkephẹ jasụ l'ojejoje. Mbụ ẹphe
ebuwarurọ l'ẹka ono gbẹ l'ọgbo sweru ọgbo.

# 35

Ẹhu-ụtso ndu a dzọtaru

1 Echiẹgu yẹe alị, adụdu
mini,
dụ iya nụ bẹ ẹhu a-tsọ.
Mgbẹgu alị-evevee bẹ a-wata
ete ẹswa mehuaha iphe,
e meberu iya g'ẹka

okoko jashịru.
2 Mbụ l'ọo-jashịkpoo
igwerigwe.
Ẹhu atsọo ya tsọshikpoo
ya ike;
l'o rwua okwe kpua ya.
L'e mee ya g'ọ dụ biribiri
g'úbvú úbvú Lébanọnu;
dụ akpabiri g'úbvú
Kamẹlu;
yẹe nsụda Sharọnu.
Ẹphe egude ẹnya phẹ
hụma
ọdu-biribiri kẹ Chipfu;
mbụ akpabiri kẹ Chileke
anyi.
3 Unu menaa g'ẹka unu,
tsụru mẹe shihu ike.
Unu emee g'ikpere unu,
aphụ kwẹekweekwee
ngụru angụru.
4 Unu pfuaru ndu nweru obu
ndzụ-agụgu sụ phẹ-a:
“Unu shihu obu ike;
gẹ ndzụ ba agụshi unu.
Lẹ Chileke unu a-bya;
bya emelata nemadzụ iphe,
o meru onye ọzo.
Ọo-bya; bya adzọo unubẹdua
ndzụ.”
5 Noo teke ẹnya a-sahụ ndu
atsụ ishi.
Nchị ndu ada nkụchi emee
phosangu.

6 Noo teke ndu ẹniyeni a-wata
azọ garamu garamu
g'ele.
Ire agbụtoshihu ndu te
epfudu opfu;
ẹphe awata erwu okwe
ẹhu-ụtso.
Mini e-shi l'echiẹgu gbafuhu
sọaha kẹ gborogboro.
Tẹme nggele eshi l'alị,
mini te eshidu dụ gbafuhu
sọaha gborogboro.
7 Ẹja evevee,
l'ekpo phuruphuru
l'a-bụru okpuru.
Alị, mini tahụru agbafushihu
ọgba bụru nggele.
Ọ bụru ẹka ono,
bụ nkụta-ọswa shi buru
iya ono
bẹ ẹswa e-fushi;
eji efushia ya;
ẹchara amịshia ya.
8 L'a bya atọgbo iya eze
gbororo; l'e kua ya ụzo,
dụ nsọ.
Ndu aasọ nsọ te eshidu iya.
Ndu a-nọdu eshi iya nụ
kpoloko abụerupho
ndu ọ dụru;
ọphu ndu eme eswe
aghaphedu l'ime iya.
9 Oduma taa nọdu iya.

Ọphu ọ dụdu anụ ọzo,
eri anụ,
byaru eshitakpọo ya
eshita ophu.
A taa hụmakpodaa phẹ nụ
ahụma ophu l'ẹka ono.
Ọ bụepho ndu a gbafụtaru bụ
ndu a-nọdu eshi iya nụ.
10 Mbụ lẹ ndu ono,
Chipfu pfụru aswa phẹ
ono a-lwa.
Ẹphe agụru ebvu lwatashịa
Zayọnu.
Ẹphe ekpuru ẹhu-ụtso ojejoje
g'onye kpu okpu eze.
Ete ẹswa yẹe ẹhu-ụtso
atụko phẹ ẹhu sweta.
Aphụ yẹe atsụ ude agbaa
ọso gbalaa.

# 36

*Senakeribu eye ndu Jierúsal*ẹmu ebvu
*(2Ndu 18:13-37; 2Iphe 32:1-19)*

1 Tọbudu iya bụ; o rwua l'apha, kwe eze, bụ Hezekáya
apha iri l'ẹno, ọ watarụ abụru eze; Senakeribu, bụ eze
ndu Asiriya bya ọgu l'alị ndu Jiuda; bya atụko mkpụkpu
phẹ g'ọ ha, bụ mkpụkpu, a kpụshiru ike lwụa lwụta.
2 No iya; eze ndu Asiriya ono bya agbẹ lẹ mkpụkpu
Lakishi zia onye-ishi ndu ojọgu iya; yeru iya ndu ojọgu,
dụ igwerigwe; bya asụ iya g'ẹphe jepfu eze, bụ Hezekáya
lẹ Jierúsalẹmu. Onye-ishi ndu ojọgu ono jerwua bya eje
apfụru l'ishi mgba-mini okpuru ụzo eli, dụ l'ụzo ono,
eeshije eje ẹka asajẹ uwe ono. 3 Ọ nọdu l'ẹka ono; ẹphe

byapfuta iya; mbụ Ẹliyakimu nwa Hilikaya, bụ onye-ishi
l'ibe eze; waa Shebuna, bụ onye edeje ẹkwo; waa Jiowa
nwa Asafu; yẹbedua bụ onye nkwakọbe.
4 Onye-ishi ndu ojọgu ono bya asụ phẹ: "Unu je akaru
Hezekáya lẹ-a: Wakwa iphe, o pfuru; mbụ Ọkalibe eze,
bụ eze ndu Asiriya. Ọ sụru-a: ?Bụ lẹ gụnu bẹ ị chịru
nwụpfu ophu i nweru kwẹe? 5 Ị sụru l'ị machawaru
ẹregede ọgu bya enweru ike, e gude alwụ ọgu. Obenu
l'opfu ngu bụ okorobo opfu. ?Bụ onye bẹ ị dakoberu
ekwefụru yẹbe eze ndu Asiriya ike? 6 Lenu; ọ kwa ndu
Ijiputu bẹ ị dakoberu; mbụ Ijiputu ono, bụ mgbawa-
ẹchara, abụjeru: onye dakoberu iya nụ l'o yejashịa ya
ẹka meka iya iphe onoya. Ọ kwa ẹgube ono bẹ Fero
dụ; mbụ eze ndu Ijiputu. Ọ kwa nno bụ g'ọ dụru iphe,
bụkpoo ndu dakoberu iya nụ. 7 Teke ị sụkwanuru mu
l'ọo Chipfu, bụ Chileke unu bẹ unu dakoberu; ?tọ bụdu
Chipfu ọbu bụ ọphu Hezekáya lwụru ẹka aagwajẹ iya;
bya emebyishia ọru-ngwẹja iya; bya asụ ndu Jiuda ẹphe
lẹ ndu Jierúsalẹmu g'ẹphe byajẹ abaa ẹja l'atatiphu ọru-
ngwẹja-a?
8 "Byalẹkwa-a g'unu lẹ nnajịuphu mu, bụ eze ndu
Asiriya tụko chịa ìdzù. I -kweta bẹ mu a-kpụru ụnu ịnya
ise kpẹe ngu; mẹ ọ -bụru l'ịi-dụ ike yechaa ya ndu a-
nọdu agba iya nụ. 9 Ọdumeka; ?dẹnu g'ị rịru l'ịi-dụ ike
kpafụ l'iphu onye-ishi ndu ojọgu nnajịuphu mu; m'obeta
ọ bụru onye ẹnya kachaa alwalwa lẹ ndu-ishi ndu ojọgu
iya; l'ẹka ọ bụ ndu Ijiputu bẹ ị dakoberu g'ẹphe chiẹ
ngu ụgbo-ịnya; chiẹ ngu ndu agba l'ịnya-ọgu? 10 Ọzo bụ
lẹ-a; ?i dobesụ l'ọ tọ bụdu Chipfu bẹ mu nọ l'ẹka bya
ọgu l'alị-a gẹ mu mebyishia ya? Ọ kwa Chipfu l'onwiya
ziru mu gẹ mu bya ọgu l'alị-a mebyishia ya."
11 Tọbudu iya bụ; Ẹliyakimu; yẹe Shebuna; waa Jiowa
bya asụ onye-ishi ndu ojọgu ono-a: "Jiko gude opfu ndu

Arámu pfuru yeru anyịbe ndu-ozi ngu; eshinu anyi anụ iya ree. Te egudeshi opfu ndu Jiuda pfuru yeru anyi; kẹle ndu nọ l'eli igbulọ anụkwa iya.”

12 Onye-ishi ndu ojọgu ono sụ phẹ: “?Bụ unu lẹ nnajịuphu unu kpoloko bẹ ọ dụ unu gẹ nnajịuphu mu ziru mu gẹ mu bya ezia ozi-a? Waawakwa. Ọ kwa unu lẹ ndu ono, nọ l'eli igbulọ ono; mbụ ndu ono, unu l'ẹphe e-mechaa ria nshị unu l'ọnu; ngụa mamịni, unu gbọru ono bẹ mu epfuru iya.”

13 Onye-ishi ndu ojọgu ono bya apfụru bya egude opfu ndu Jiuda bya arashịa ya ike sụ: “Unu nụmakwa iphe, o pfuru; mbụ Ọkalibe eze ono, bụ eze ndu Asiriya!
14 Wakwa iphe, eze ndu Asiriya pfuru: Unu te ekwekwa gẹ Hezekáya dephua unu. Ọ tọo dụkwa ike adzọ unu!
15 Ọphu unu ekwekwa gẹ Hezekáya deta unu g'unu dakobe Chipfu; l'ẹka oopfuru unu asụje lẹ Chipfu ta adụkwa iphe, e-me g'ọ tọ dzọta unu. Lẹ mkpụkpu-a taa lakwa l'ẹka eze ndu Asiriya. 16 Unu ta angakwaru Hezekáya nchị; kẹle eze ndu Asiriya sụkwaru-a g'unu wụfuta wụ-pfuta iya gẹ yẹle unu doshia. Ọo ya bụ g'onyemonye lẹ g'unu ha eria iphe, shi lẹ vayịnu iya; ria akpụru, shi l'oshi figu iya; bya angụa mini, dụ lẹ wẹlu iya; 17 jasụ teke ya a-bya eduta unu; lashịa l'alị, dụ gẹ k'unu; mbụ alị, ereshi dụ; mẹe ọ̀phúú dụ iya; alị, nri dụ; tẹme opfu-vayịnu dụ iya.

18 “Unu te ekwekwa gẹ Hezekáya dephua unu; kẹle ọo-sụ unu lẹ Chipfu l'a-dzọtakwa unu. ?Ọ dụkporu ọha ọphu agwa alị phẹ nafụtajewaru l'ẹka eze ndu Asiriya?
19 ?Bụ awe bẹ agwa ndu Hamatu yẹe kẹ ndu Apadu nọ? Agwa ndu Sefavayimu; ?ẹphe nọ l'awe? ?Ẹphe dụru-a ike dzọta ndu Samériya l'ẹka yẹbe eze ndu Asiriya tọo?
20 ?Bụ agwa ole l'ime agwa ndu alị ono bẹ dụru ike nafụta

ndu alị iya l'ẹka iya? ?Dẹnu gẹ Chipfu e-shi dụ ike nafụta
ndu Jierúsalẹmu l'ẹka iya?”

21 Ndu Jiuda ono, oopfu eyeru ono nọduepho nggujing-
guji; ọphu ọ dụdu onye ọphu pfuru opfu yeru iya; kẹle
eze, bụ Hezekáya tụru ekemu sụ g'ọ to dụkwa onye e-
yeru iya ọnu.

22 Tọbudu iya bụ; Ẹliyakimu nwa Hilikaya, bụ onye-
ishi l'ibe eze; yẹe Shebuna, bụ onye edejeru eze ẹkwo;
waa Jiowa nwa Asafu, bụ onye nkwakọbe tụgbua; o bụru
phẹ ejepfu Hezekáya. Ẹphe gbajachaa uwe phẹ agbaja.
Ẹphe jerwua bya eje akọoru iya iphe, onye-ishi ndu ojọgu
ono pfuru.

# 37

### *Hezekáya epfu an*ụ Chileke
### *(2Ndu 19:1-13)*

1 Tọbudu iya bụ; Hezekáya nụmaepho iphe ono ọ
gbajashịa uwe iya; bya achịta uwe-aphụ yee; ọ bụru
iya eje l'eze-ụlo Chipfu. 2 Ọ bya ezia Ẹliyakimu, bụ
onye-ishi l'ibe eze; yẹe Shebuna, bụ onye edejeru eze
ẹkwo; waa ndu-ishi lẹ ndu-uke Chileke; g'ẹphe jepfu
onye mpfuchiru Chileke ono, bụ Azáya nwa Emọzu.
Ẹphe tụko yee uwe-aphụ jeshia. 3 Ẹphe je je asụ iya:
“Hezekáya sụru-a: ‘Ntanụ-a bụkwa mbọku, oke iphe-
ẹhuka dapfutaru anyi; bya abụru mbọku, aahụ̀ anyi
ahụ̀hù; bya abụru mbọku, iphe-iphere jiru anyi iphu. Ọ
dụkwa g'ẹgube ime anọduje eme nwanyị; ọ tọ dụdu ike
nyịa ọnyi nwụa nwata ọbu-a 4 O nweru g'ọo-dụ; Chipfu,
bụ Chileke ngu anụma iphe ono, onye-ishi ndu ojọgu
ono epfu ono; mbụ onye ono, nnajịuphu iya, bụ eze ndu
Asiriya yeru g'ọ bya epfutọshia Chileke ono, dzụ ndzụ
ono; k'ọphu bụ lẹ Chipfu a-barụ iya mba l'opfu ono, yẹbe

Chipfu, bụ Chileke ngu nụmaru ono. Ọo ya bụ; pfuru nụ
Chileke l'opfu ẹhu ndu ọphu phọduru nụ.' "
5 Ọo ya bụ; ndu ono, eze, bụ Hezekáya ziru ono bya
abyapfuta Azáya; 6 Azáya sụ phẹ: "Unu je asụ nnajịiuphu
unu lẹ Chipfu sụru-a: 'Ba atsụkwa ebvu lẹ k'iphe ono,
ị nụmaru ono; mbụ opfu ono, ndu-ozi eze ndu Asiriya
gude bya epfutọshia mu ono. 7 Hụma lẹ mu e-woru unme
lanụ ye iya l'ẹhu; k'ọphu bụ l'ọo-nụma asụlasu; lashịa
alị phẹ; mu emee g'e gude ogu-echi gbua ya l'alị phẹ
gẹdegede.' "
8 Onye-ishi ndu ojọgu ndu Asiriya bya anụma l'eze ndu
Asiriya lụfuwaru lẹ mkpụkpu Lakishi; ọ laphu azụ je
ahụma onye eze ono l'ẹka ootso ndu Libuna ọgu.
9 Noo ya; a bya ezia Senakeribu lẹ Tirihaka, bụ eze ndu
Kushi bẹ abyapfutawa iya ọgu; o zia ndu-ozi g'ẹphe je
ezia Hezekáya sụ: 10 "Waa iphe, unu e-pfuru Hezekáya
baa; mbụ eze ndu Jiuda: 'B'ekwekwa gẹ Chileke ngu,
bụ onye ono, i dakoberu ono duphua ngu; l'ẹka oopfu
lẹ Jierúsalẹmu ta alwadu l'ẹka mụbe eze ndu Asiriya.
11 Ọphu doru ẹnya bụ l'ị nụmahawaru iphe, ndu eze
ndu Asiriya meru ndu alị ọzo; mbụ l'o mebyishikọtaru
phẹ. ? Aa-nafụta-chia gụbedua tọo? 12 Mbụ-a; ndu
ọhamoha ono, nna mu oche phẹ mebyishiru ono; ?agwa
phẹ dzọtaru phẹ-a tọo? Mbụ agwa ndu Gozanu; yẹe kẹ
ndu Haranu; waa kẹ ndu Rẹzefu; mẹ kẹ ndu Édẹnu, bụ
ndu shi nọdu lẹ Telasa. 13 ?Bụ awe bẹ eze ndu Hamatu
nọ nta-a; mẹ eze ndu Apadu; mẹ eze ndu mkpụkpu
Sefavayimu; ọzoo kẹ ndu Hena; ọzoo kẹ ndu Iva?' "
14 Tọbudu iya bụ; Hezekáya bya anata ẹkwo-ozi ono
l'ẹka ndu e ziru iya; bya eworu iya gụa. Ọ bya abahụ
l'eze-ụlo Chipfu bya eje eworu iya tọsaa l'iphu Chipfu.
15 Hezekáya bya epfuru nụ Chipfu sụ: 16 "Gụbe Chipfu,
bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike; gụbe Chileke kẹ ndu Ízurẹlu;

onye sụgaru l'aba-eze iya l'echilabọ chierobu. Ọo ngu
kpoloko bụ Chileke, nwekọta alị-eze, dụ lẹ mgboko
mgburugburu. Ọo ngu meru igwe bya emee eliphe.
17 Ngabẹnu nchị gụbe Chipfu; nụma iphe, mu epfu.
Sanaa ẹnya hụmadupho. Ngabẹkpodapho nchị; nụma
opfu ono, Senakeribu ziru g'e gude bya epfutọshia gụbe
Chileke, nọ ndzụ ono.

18 "Gụbe Chipfu; ọ bụkwa eviya lẹ ndu eze ndu Asiriya
mebyishiwaru ọhamoha; waa alị phẹ. 19 Ẹphe chịwaru
agwa ndu ono ye l'ọku; o kepyashịa; kẹle agwa phẹ ọbu
ta adụdu iphe ọzo, ọ bụ; gbahaa nkụ; yẹe mkpuma, bụ
iphe, nemadzụ gude ẹka mee. 20 Ọo ya bụ lẹ-a; gụbe
Chipfu, bụ Chileke anyi; dzọnaa anyi l'ẹka eze ndu Asiriya
ono; k'ọphu alị-eze, dụkota lẹ mgboko l'ophu a-maru
l'ọo gụbedua kpoloko; mbụ gụbe Chipfu bẹ bụ Chileke."

### *Adada Senakeribu*

21 Tọbudu iya bụ; Azáya nwa Emọzu bya ezia Hezekáya
ozi sụ: Chipfu, bụ Chileke kẹ ndu Ízurẹlu sụru l'iphe ono,
i pfuru nụ iya l'opfu ẹhu Senakeribu, bụ eze ndu Asiriya
ono bẹ ya nụmawaru. 22 Waa iphe, Chipfu pfuru l'opfu
ẹhu Senakeribu baa:

Nwada Zayọnu ta adụekwa
iphe, ọ gụberu ngu;
tẹme ọ nọdu aja ngu
ewenu.
Nwada Jierúsalẹmu ekwe
l'ishi l'ẹka ịigba ọso lẹ
ndaba agbala.
23 ?Bụ onye bụ onye ono,
i shi ephu iphu;
bya epfutọshi iya ono?
?Bụ onye bẹ i shi atụ ụzu
ekpu-a;

mbụ onye ono,
i gude eku-onwonye
vọoru ẹnya ono?
Ọ kwa Onye dụ Nsọ
kẹ Ízurẹlu!
24 I ziru ndu-ozi ngu;
ẹphe bya eburu iphu nyabẹ
Nnajịuphu.
Ị sụru l'i gudewaa ikpoto
ụgbo-ịnya-ọgu ngu
nyirwuchaa mkpakpọnu
úbvú úbvú;
Mbụ l'i nyirwuwaru
mkpakpọnu,
ẹka úbvú úbvú
Lébanọnu jeberu;
bya egbutsushiwa oshi sida,
dụ iya nụ, bụ ndu ọphu
kachaa etse ogologo;
mẹ oshi payịnu iya
ọphu kachaa adụ ùbvù
l'ẹnya;
bya ejerwuwaa ẹka ọ
kachaa abụru ẹpfukala;
mẹ ẹka ọ kachaa abụru ọswa,
dụ ree.
25 Mbụ l'ị tụwaru wẹlu l'alị ndu
ọhozo; bya angụa ya mini;
bya egudewaa
ọbochi-ọkpa ngu zọo iphe,
bụ nggele,
dụkota l'alị Ijiputu tọlitoli;
jasụ ọ tashịhukota.

26 Sụ-a; ?ọ dụ g'ị tị nụmajeduru
iya?
Ọo mu tubuhawaru g'ọ dụ
nno teke dụhawaa ẹnya.
Mbụ l'ọ bụro teke ndiche
bẹ mu chịhawaru iya
rọo dobe.
Ọ bụru nta-a bẹ mu
meru iya g'ọ vụa;
mbụ mee;
i woru mkpụkpu,
a kpụgbaaru o shihu
ike mebyishia;
ọ bụru ikpo mkpuma.
27 Ọ bụru iya bụ;
ike bvụ ndu bu iya nụ.
Ẹphe bụru ndu a tụru
ẹberebete;
e meru iphe-iphere
kpua phẹ.
Ẹphe bya adụ g'iphe,
a kụru l'opfu; g'iphe,
rwuru irwu k'ọ̀phúú;
mbụ dụ g'ẹswa,
furu lẹ mkpotsu ụlo,
anwụ chigbushiru
l'ẹbe adụ g'o vutaberu l'eli.
28 “Obenu lẹ gụbedua bẹ mụbe
Chileke maru ẹka ị nọ.
Mu maru teke ịibata abata;
maru teke ịitugbu
atụgbu.
Mu maru g'ịibataberu

hanyịhanyi ekpu mu.

29 Eshi ọphu ọ bụ mụbe Chileke
bẹ ịibaru hanyịhanyi;
tẹme bẹebeebee,
iipfuru mu rwuwa mu
nchị;
bẹ mu e-woru ịkokoro
dzụbe ngu l'imi;
woru mkpụrukpu-ígwè
ye ngu l'ọnu g'ịnya.

Mu emee ngu g'i shia ọphu
i shi laphu azụ l'ẹka
i shi.

30 "A -bya lẹ gụbedua, bụ Hezekáya; waa iphe, a-bụru
ngu iphe-ọhubama baa: Apha-a bẹ ii-ri iphe, daru ẹda. O
-be apha ọzo l'i ria ọphu shi l'ono futa. O -rwua l'apha
k'ẹto iya; kọo opfu kpata iphe, ị kọru iya. Gbaa opfu-
vayịnu; ria akpụru, e-shi iya nụ. 31 Sụ-a; nwa ndu ono,
a-phọdu nụ l'ọnu-ụlo Jiuda bẹ a-gba ọgbarabvu l'ime
alị; mịa mebyi l'eli mgboko; 32 noo kẹle o nweru nwa ndu
phọduru nụ lẹ Jierúsalẹmu. Ikpoto ndu wafụru nụ e-shi
l'úbvú Zayọnu. Ọ bụru Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike
e-gude g'ọ phụ-be iya l'ẹhu mee ya.

33 "Ọo ya bụ; waa iphe, Chipfu pfuru l'ẹhu eze ndu
Asiriya baa: Ọ tọ byadu a-bata lẹ mkpụkpu-a; ọphu
ọ byadu agba g'ọ ka mma l'ọo apfụ l'ẹka-a. O too
gudekpọdanu iphe, eegbobutajẹ onwonye abyakube iya
ntse; ọphu ọ byadu ebvuphe iya ose-ọgu. 34 Ọo ụzo, o
shi bya bẹ oo-shi laa. Ọ tọ byadu abata lẹ mkpụkpu ọwa
abata ophu." Nokwa iphe, Chipfu eepfu. 35 "Sụ-a; mu e-
gude k'ẹpha mu; mẹ opfu ẹhu Dévidi, bụ onye-ozi mu
gbobuta mkpụkpu-a; dzọo ya."

36 Tọbudu iya bụ; ojozi Chipfu tụgbuepho bya eje
l'ẹka ndu ojọgu Asiriya dọru; bya eje egbua ụkporo ụnu
ụmadzu ugbo ụkporo l'ẹto l'ụnu ụmadzu labọ l'ụkporo
ụmadzu iri* l'ime ndu ojọgu ono. E tehushia l'ụtsu; odzu
zẹshiwaa kẹ bẹe. 37 Noo ya; Senakeribu, bụ eze ndu
Asiriya tụgbua; ọ bụru iya alaphu azụ. Ọ laphushia azụ
lẹ Ninive je anọdu. 38 O be ujiku lanụ; ọ nọdu agwa
agwa iya, bụ Nịsuroku; ụnwu iya, bụ Adụrameleku; mẹ
Shareza je egude ogu-echi gbugbua ya; gbaru lashịa alị
Araratu. Ọo ya bụ; Esahadọnu, bụ nwa iya bụru eze
nọchia ẹnya iya.

# 38

*Iphe-ememe guderu Hezekáya*
*(2Ndu 20:1-11)*

1 Ọ bụru teke ono bẹ iphe-ememe guderu Hezekáya;
k'ọphu bụ l'ọ nọwaa l'ọnu ọnwu. Onye mpfuchiru
Chileke, bụ Azáya; nwa Emọzu bya ejepfu iya je asụ iya:
Chipfu sụru-a: "Dozia ibe ngu ree; kẹle ịibyawa anwụhu;
ị tịi kadụ mma."

2 Noo ya; Hezekáya bya aghaa iphu l'ụzo igbulọ pfuru
nụ Chipfu sụ: 3 Gụbe Chipfu; nyatanụ gẹ mu bụ-be onye
gude ire-lanụ; mẹ obu mu g'ọ ha tsoo ụzo nkengu; mẹ
gẹ mu gude meberu iphe, dụ ree l'ẹnya ngu. Hezekáya
raa ẹkwa kpọo pfụla pfụla.

4 Tọbudu iya bụ; Opfu Chipfu bya atụba Azáya lẹ nchị
sụ iya: 5 "Je akaru Hezekáya lẹ-a: Waa iphe, o pfuru;
mbụ Chipfu, mbụ Chileke kẹ nna ngu, bụ Dévidi: Mu
nụmawaru epfupfu, i pfuru nụ mu; bya ahụmawaa ẹnya-
mini, shi ngu l'ẹnya. Mu e-yekwafụa apha iri l'ise lẹ ndzụ

* 37:36 37:36 Bụ iya bụ 185,000 lẹ mbekee.

ngu. 6 Ọzo bụ lẹ mu a-nafụta ngu; nafụta mkpụkpu-a
l'ẹka eze ndu Asiriya. Mu a-gbaru mkpụkpu-a ọdzori.
7 “Waa iphe-ọhubama, Chipfu e-goshi ngu baa; g'i
gude maru lẹ Chipfu e-me-a iphe ono, o pfuru ono.
8 Nwonyonyo iphe ono, a kpụshiru, ee gudeje enyi ụlo-
eli Éhazu ono; bẹ mu e-me g'o gude ntụ-ọkpa iri tsụ-phu
azụ.” No iya; onyonyo ono tsụa rịbo; gude ntụ-ọkpa iri
tsụ-phu azụ eme lẹ g'o shi habe ogologo.
9 Ọwa-a bụ iphe, Hezekáya deru; mbụ eze ndu Jiuda
g'iphe-ememe ono mechaarụ iya; ọ kachaa mma.
10 Mu sụkwaru: ?Bụ lẹ
mkpakpọnu ndzụ mu-a
bẹ mu jeru je eshisweta
ọnu ọguzo alị-maa?
A naa mu nfụ nafụ mu nwa
apha ndzụ mu ọphu
phọduru nụ?
11 Mu sụkwaru lẹ mu taa
hụmabaedu Chipfu
l'alị ndu dzụ ndzụ.
Ọphu mu egudebaẹdu
ẹnya ahụma nemadzụ,
dzụ ndzụ;
ọzoo kẹ g'anyi lẹ ndu
nọkwadu l'eliphe-a
bubaaru.
12 A lashịru ndzụ mu g'onye lashịru
ẹswa l'ụlo ụnwu-eswi;
mbụ l'ọo g'onye akpa iphe
akpakpa aphụkobeje iphe,
ọ kpagheru akpaghe-a
bụ gẹ mu
phụkobewaru ndzụ mu.

Ọ bya atụwaa mu eri
gbụpyia l'iphe, aakpajẹ iphe;
bya egbubufu iya.
Ọ bụru-a shi l'eswe gẹ nchi
jihu bẹ i mebufụwaru
nụ kẹ ndzụ mu.
13 Mu nọdu atajẹkpoepho
nshi jasụ nchi abọhu.
Obenu l'o gwerụ mu
ọkpu arakabya g'ẹka
oduma ata anụ.
Ọ bụru-a shi l'eswe gẹ nchi
jihu bẹ i mebufụwaru
nụ kẹ ndzụ mu.
14 Mu gbọaha chachacha
g'apya ọzoo g'ẹsha.
Mu deahaa kukuku
g'ede-kuukuu.
Mu lenyaa ẹnya l'eligwe;
ẹnya meahaa mu ẹhuka.
Mu sụ: Jiko Nnajịuphu;
mu eje iphe-ẹhuka;
byanụ agbaarụ mu
mkpu!
15 Ọle ọ bụ; ?mu a-sụkwanu
agha?
O pfuakwaru opfu nụ mu;
mbụ ọ bụru yẹbedua
l'onwiya meru iphe ono.
Mu a-nọdukpoepho eje
nwa gelee jasụ gẹ mu
a-nọ-beru;
kẹle obu atawa mu

nyịkinyiki.
16 “Gụbe Nnajịịuphu;
ọ kwa ụdu iphe,
dụgbaa ẹgube-a bẹ
nemadzụ gude buru.
Ọ bụkwaru iya phọ bẹ unme,
nọ mu l'ẹhu byaru bya
egudewaa nọdu ndzụ nta-a.
Jiko menaa gẹ mu wekọrohu;
menaa gẹ mu nọdu ndzụ!
17 Ọkpobe opfu;
ọ kwa g'ọo-dụru mu lẹ ree
bẹ mu gude jee iphe-ẹhuka,
dụ nno.
Ọ bụru l'ọo l'i yeru mu obu
bẹ i ti kwedu gẹ mu
bahụ lẹ nsụkutu ọla-l'iswi.
Ị bya atụko iphe-ẹji mu l'ophu
chịru ye onwongu l'azụ;
18 kẹle ndu nọwaa l'alị-maa te
etukwa ngu ẹpha.
Ọphu ndu nwụhuwaru anwụhu
agụkwa ebvu egude etu
ngu ẹpha.
Ọphu ndu e kpochiru l'ilu
eleẹkwa ẹnya ire-lanụ
nkengu.
19 Ọ kwa ndu nọ ndzụ;
mbụ l'ọo ndu nọ ndzụ bụ ndu
anọduje etu ngu ẹpha gẹ
mu etu ngu iya ntanụ-a.
Ọ bụru ndu bụ nna anọduje
akọru ụnwu phẹ g'ị bụ-be

onye ire-lanụ.
[20] Chipfu a-bya adzọo mu ndzụ.
Ọo ya bụ l'anyi a-nọdu agụ
ebvu akpọ iya l'une
jasụ g'anyi a-nọ-beru ndzụ.
Ọ bụru l'eze-ụlo Chipfu bẹ
anyi a-nọdu gụa ya."
[21] Azáya pfuwaru sụ g'e meta iphe oshi figu tsua et-
sutsu debechaa Hezekáya l'ẹjo-onwo ono, phọkashiru iya
l'ẹhu ono; l'o -mewaa ya nno; l'o wekọrohu. [22] Hezekáya
bya ajịa sụ: "?Bụ gụnu bụ iphe-ọhubama, e-goshi lẹ mu
e-mechaa bahụbaa l'eze-ụlo Chipfu ọzo?"

# 39

*Ndu nnochi-*ẹnya, shi Bábilọnu
[1] Ọ bụru teke ono bẹ Merodaku-Baladanu; mbụ nwa
Baladanu, bụ eze ndu Bábilọnu deshiru ẹkwo-ozi nụ g'e
je anụ Hezekáya; bya eyekwaru iya ya phọ iphe-ọma g'e
gude bya iya ajịji; kẹle ọ nụmaru l'iphe shi eme iya; ọ
kawaa mma. [2] Hezekáya nabata ndu ono, e ziru ozi ono;
bya egoshi phẹ iphe, nọkota l'ụlo-ẹku iya; mbụ goshi
phẹ mkpọla-ọchaa; yẹe mkpọla-ododo; mẹ manụ, eshi
mkpọ; mẹ ngwọgu iya l'ophu; mẹ iphe, bụkota ẹku iya.
Ọ tọ dụdu iphe, dụ l'ibe iya; ọzoo iphe, dụ l'alị-eze iya
l'ophu, o to goshiduru ndu ono; mbụ Hezekáya.
[3] Tọbudu iya bụ; Azáya, onye mpfuchiru Chileke bya
ejepfu eze, bụ Hezekáya je ajịa ya sụ: "?Bụ awe bẹ ndu
ono shi bya? ?Bụ gụnu bẹ ẹphe pfuru?"
Hezekáya sụ iya: "Ẹphe shikwa ẹka dụ ẹnya bya. Ẹphe
shi Bábilọnu."
[4] Azáya bya ajịa ya sụ: "?Bụ gụnu bẹ ẹphe hụmaru
l'ibe ngu?"

Hezekáya sụ iya: "Ẹphe tụkokwaru iphemiphe, dụ l'ibe
mu hụma-gbua. Ọ tọ dụkwa iphe, dụ g'ẹku, mu nweru
enweru, mu te egoshiduru phẹ."
5 Noo ya; Azáya bya asụ Hezekáya: "Nụma opfu, shi
Chipfu l'ọnu; mbụ Ọkalibe-Kakọta-Ike ono. 6 Ọ sụru-
a: Lẹ mbọku abyawaa teke iphemiphe, dụ l'ụlo eze ngu;
mẹ iphe ono, nna ngu phẹ setarụ dobe; ọ nọo byasụ
nta-a a-bụru iphe, ee-vuta lashịa Bábilọnu. Ọ tọ dụdu
m'ọphu ee-wophodo. Noo iphe, Chipfu epfu. 7 Tẹme
ụnwu ngu unwoke, bụ ndu a nwụtaru ngu bẹ aa-harụ
kpụkaa; ẹphe eje abụru ndu anọduje eleta ibe eze ndu
Bábilọnu ẹnya."
8 Hezekáya sụ iya: "Opfu Chipfu ono, i pfuru ono dụkwa
ree." Iphe, o gude pfua nno bụ l'ọ rịru sụ lẹ nchị a-dụ-a
doo; ọphu ọ dụdu iphe, bya l'eme teke ya nọkwadu ndzụ.

# 40

*Adụ ndu kẹ Chileke obu*

1 Unu dụnaa ndibe mu
obu! Unu dụnaa phẹ obu!
Nokwa iphe, Chileke unu
pfuru bụ onoya.
2 Unu pfunaa opfu bẹlebele
yeru Jierúsalẹmu.
Unu ranaa ya arara g'ọ maru
l'ozi-ike ono,
ooje ono bẹ bvụwaru nụ.
L'a pfụwaru ụgwo ẹjo-iphe,
o meshiru.
L'ewere, Chipfu meru iya
hawaa g'iphe-ẹji, o meru;
mbụ l'ọ hawaa g'ọo ya
ugbo labọ.

3 Ọ dụru onye ara iya arara sụ:
“Unu meziaru Chipfu ụzo
l'echiẹgu.
Unu mee eze gbororo iya g'ọ
dụgbaa nhamụnha lẹ
mgbẹgu alị-evevee.
4 Ẹka dụ nsụda bẹ ee-nwuchi
enwuchi.
Iphe, bụ úbvú úbvú bẹ
ee-gbuzekọta egbuze.
Ẹka dụ nkwagbo-nkwagbo bẹ
ee-mezi emezi.
Ẹka dụ
kpọkoro-kpọkoro-kpọkoro
l'a rwazee ya arwaze g'ọ
kwọo akwọkwo;
5 k'ọphu ee-kpuha ọdu-biribiri
kẹ Chipfu g'a hụma.
Iphe, bụkota nemadzụ l'ophu
ahụmakota iya;
kẹle Chipfu gudewaa ọnu
pfua ya.”
6 Ọ dụru olu-opfu, epfu sụ:
“Chia mkpu!”
Mu sụ: “?Bụ gụnu bẹ mu
e-chi lẹ mkpu?”
Ọ sụ: “Chia mkpu sụ lẹ
nemadzụ l'ophu
dụkota g'ẹswa.
Tẹme mma, ẹphe ama
dụkwapho g'okoko ẹswa,
dụ l'ẹgu.
7 Ọobujeru;

ẹswa -kpọhuwaa nkụ;
okoko iya erishihu dashịhu;
kẹle udzu-ọnu Chipfu
phụshiru phẹ.
Hoo haa; nemadzụ bụkwa
ẹswa.
8 Mbụ l'ọobujeru;
ẹswa -kpọhuwaa nkụ;
okoko iya erishihu dashịhu;
obenu l'opfu, Chileke anyi
pfuru;
a-pfụru pfụshia ike jasụ
l'ojejoje."
9 Je apfụru l'eli úbvú, ha shii;
gụbe Zayọnu;
onye byaru ezi ozi-ọma.
Gụbe Jierúsalẹmu,
byaru ezi ozi-ọma;
wolinaa olu chia mkpu!
Wolia olu; gẹ ndzụ ba agụshi
ngu!
Sụ mkpụkpu,
dụgbaa l'alị ndu Jiuda-a:
"Wakwa Chileke unu baa!"
10 Lekwa! Nnajịuphu,
bụ Chipfu gudekwa
ike-ọkpu abya.
Ọ bụru ọkpehu iya bẹ
oo-gude bụru eze.
Lekwa! O gudekwa obunggo
eje abya;
bya egudekwaphọ ụgwo
ọo-pfụ.

11 Ndu ẹphe l'iya swị bẹ
ọonoduje eche g'onye
eche atụru.
Ọ nọdu achịkobeje ụnwu
atụru ono heru l'ẹka;
mbụ heru phẹ dobe onwiya
ntse k'ọphu ẹphe a-nọduje
iya l'obu.
Tẹme ọ nọdu atọje nwẹhu
erwu ndu ọphu he nwa.
12 ?Bụ onye dụjewaru ike
gbaa ẹka okorokoro
gude tụ̀a mini,
nọ lẹ mgboko l'ophu atụ̀tù;
ọzoo gude nkwo-ẹka
tụa akpaminigwe
l'ophu?
?Bụ onye dụjewaru ike
kpokọo urwuku,
dụ l'eliphe l'ophu kporu
ye lẹ nkata;
ọzoo wota iphe-atụ̀tù
gude tụ̀a ẹrwa úbvú,
nọkota nụ?
13 ?Bụ onye maru uche Chipfu?
tọo ?bụ onye a-sụ lẹ ya
zijeru iya iphe;
lẹ ya bụ onye akpọ-zijeru
Chileke ụzo?
14 ?Bụ onye bẹ Chipfu jeru
akpata ishi?
tọo ?bụ onye ziru iya
ụzo ọphu bụ ọkpobe

ụzo?
?Bụ onye bẹ ọ bụ;
mbụ onye ziru iya iphe,
ọ maru;
ọzoo onye goshiru iya ụzo,
oo-shi mee g'iphe doo
ya ẹnya?
15 Tororo opfu bụ l'ọhamoha
dụkwa gẹ mini,
daru kpọngu l'ime
bọketi.
Iphe, a gụberu phẹ bụ-a
nwurwuku, dụ l'iphe,
egudeje tụ̀a ẹrwa iphe.
Mbụ l'ọotụ̀je ndu bukube
eze-ẹnyimu g'onye
kpokọberu urwuku,
dụ rwukuru rwukuru
atụ̀ l'iphe.
16 Mbụ l'ọswa, dụ l'úbvú úbvú
Lébanọnu ta asụkwa abụru
nkụ eye l'ọku.
Ọphu anụ, nọkota iya nụ
asụkwapho
g'eegbushi iya gude
gweeru Chipfu
ngwẹja-akpọ-ọku.
17 L'iphu iya bẹ ọhamoha l'ophu
ta adụkwa iphe, o bụ.
Ọ gụberu phẹ iphe,
adụdu iphe, ọ bụ;
mbụ l'iphe-iphoro ka
phẹ shii.

18 ?Bụ onye bẹ unu a-tụru
Chileke yeru?
?Bụ ntẹkpe gụnu bẹ unu a-sụ
lẹ yẹe ya bụ iphe lanụ?
19 L'a -bya l'iphe,
a kpụru akpụkpu;
ono bụ onye eme ọna
kpụru iya.
Ọ bụru onye-ụzú
mkpọla-ododo wụru
iya mkpọla-ododo;
bya emetaru iya
ẹgbirigba mkpọla-ọchaa.
20 Ọobujeru onye daru ụkpa
k'ọphu ọ tọo dụdu ike
anụ Chileke ẹgube
iphe ono;
l'ooje ahọta oshi,
kpọru akpaa;
bya eje achọo onye eme
ọna emegharu iya
ẹka kua
l'ọ bya apyịa ntẹkpe
doberu iya; mbụ ntẹkpe,
ta abyadụ aharịbejeru
ọkpa aharịberu.
21 ?Unu ta amahaada? Tọo
?unu teke anụma-swee?
?Te epfuduru iya unu e
-shikpọo lẹ mbụ?
?Toko dodu unu ẹnya g'e
gude tọo ọkpa
mgboko l'ophu?

22 L'ọ nọ l'aba-eze iya
l'ephekerephe;
nọghata eliphe,
gbaru mgburugburu.
Ndu nọ l'eliphe dụgbae ya
phọ ribariba g'ụnwu ogu.
Eligwe l'ophu bẹ ọ phụshiru
tọgbo g'onye phụshiru
ukpo;
bya eworu iya tọgbo
jakpata g'ụlo-ẹkwa,
aabya eburu eburu.
23 Ndu-ishi bẹ oomeje;
ọ tọ dụdu iphe,
ẹphe abụ.
L'ọ bya emee ndu-ishi
lẹ mgboko-a;
ẹphe abụru iphe-mmanụ.
24 Sụ-a; ọobujeru akụku,
aakụ phẹ l'alị;
adzadza, aadza phẹ;
ẹphe -jekwadu-a agbabẹ
ọgbarabvu l'alị;
l'ọophuwa phẹ ọnu;
ẹphe anwụlwashihu.
Oke phẹrephere abya
ezikọta phẹ g'ẹswa ereshi.
25 Onye nsọ ono jịru sụ-a:
“?Bụ onye bẹ unu a-tụru
mu yeru?
Mbụ-a; ?bụ onye bẹ unu epfu
lẹ mu l'iya ha ẹnya
nhamụnha?”

26 Palinaa ẹnya lee
l'akpaminigwe.
?Bụ onye meru iphemiphe
ono dobe?
Mbụ onye ono,
emeje kpokpode,
dụ igwerigwe l'ọofushi
nanụnanu;
tẹme ọ nọdu ekuje
phẹ ẹpha l'ẹhu l'ẹhu.
Ọ bụru l'ike parụ onye
ono ẹka;
tẹme ọkpehu dụ iya
meru g'o gude ọphu ọ
dụdu kpokpode ono
mẹ nanụ etuphahụje nụ.
27 Unubẹ ndibe Jiékọpu;
?dẹnu g'o gude unu
pfua ẹgube opfu-a?
Mbụ-a; unubẹ ndibe Ízurẹlu;
?dẹnu g'o gude unu
nọdu agụ aphụ?
Kẹle unu sụru lẹ Chipfu ta
amadụ iphe-ẹhuka,
unu eje;
mbụ lẹ Chileke unu ta
adụdu iphe,
ọ gụberu iphe,
rwuberu unu?
28 ?Unu ta mahaada?
Tọo ?unu teke anụma-swee
lẹ Chipfu bụ Chileke,
l'a-nọ jasụ lẹ tuutuutuu
lẹ mịimiimii?

Ọ bụru iya meru eliphe
l'ophu jasụ l'ẹka o
jeberu.
Ike ta abvụdu iya;
ọphu nkwo atsụdu
iya mẹe;
ọphu ọ dụdu onye
amakọtaru nkwamẹnya
nkiya.
29 Ọo ya emeje g'ike dụ
onye ike bvụru.
Tẹme ọ nọdu emeje g'onye
dụ nmẹlenmele rọkota
ike.
30 Mbụ lẹ-a; ụnwu ọgbo
lanụ emenyakwaa iphe;
ike abvụ phẹ;
ẹphe emehu nmẹlenmele.
Mbụ lẹ ndu bụkwadu
okorọbya abụjeru a -nọnya;
ẹphe evukota iphe daa iko.
31 Obenu lẹ ndu daru ngabẹru
Chipfu bẹ ike a-nọdu
aka adụdu.
Ẹphe e-gude ǹkù ephe
l'eli l'eli g'ugo.
Ẹphe agbaa ọso;
ike ta abvụdu phẹ.
Ẹphe ejee ije; nkwo ta atsụdu
phẹ mẹe.

# 41

*Onye a-n*ọdu eyeru Ízurẹlu ẹka

1 Unubẹ ndu bukube
eze-ẹnyimu;
unu nọdukwa nggujingguji
l'iphu mu!
G'ike kabakwaa adụ
ọhamoha!
G'ẹphe kpịritakwaru
bya eyee ọnu!
G'anyi je edzuda l'ụlo-ikpe!
2 “Sụ-a; ?bụ onye jeru
je akpalia onye
pfụberekoto l'ụzo
ẹnyanwu-awawa;
mbụ onye abụjeru;
ọ -halia ọkpa l'ọ lwụa lwụta.
Mbụ lẹ Chipfu ewojeru
ọhamoha ye iya l'ẹka;
bya akwatsushiaru
iya ndu eze.
Ọ nọdu egudeje ogu-echi
gwee phẹ arakabya;
gbaa phẹ apfụ jasụ ẹphe
phekashịhu g'ẹswa ereshi.
3 Ọochije phẹ ọso;
ejerọ l'iphu l'iphu.
Ọ tọ dụdu iphe, eme iya nụ.
Mbụ eshichaa ụzo,
ọkpa iya teke eshiswee
lẹ mbụ.
4 ?Bụ onye meru iphemiphe
ono; mee ya meghaa;
mbụ shiẹpho lẹ mbụ ebu
ọgbo l'onwiya?

Ọ kwa mbẹdua, bụ Chipfu;
onye nọ swiru ndu kẹ mbụ;
tẹme mu jekwa anọdu
swiru ndu k'ikpazụ;
ọo mu bụ onye ọbu!”
5 Ndu bukube eze-ẹnyimu
hụma iya; ndzụ gụhu phẹ.
Ndu bu l'ẹka eliphe jeberu
nọdu anma
pyaapyaapyaa eje
akpịritaru.
6 Onyenọnu nọdu eyeru nwibe
iya ẹka.
Ẹphe nọdu asụje nwibe phẹ-a:
“Shihukpọekwapho ike!”
7 Ndu maru eme ọna nọdu
adụkpoepho ndu ụzu
mkpọla-ododo obu.
Onye ọphu egudeje ọngu
akwọ iphe tẹretere
nọdu agba onye ọphu
edzepfuje iya edzepfu
unme.
Ọ -nọdu l'ọ sụ onye ọphu
agbajẹ iya ọku gude
dzepfua ya: “Ọ dụkwaa ree!”
L'ọ bya akụa ntẹkpe ono
ngga g'o to rikashịhu.
8 A -byakwanụ lẹ gụbe Ízurẹlu,
bụ onye-ozi mu;
mbụ gụbe Jiékọpu;
onye mu gude ẹka mu
họta;

mbụ gụbe oshilọkpa
Ébirihamu, bụ onye mu l'iya
eshi ọ̀nyà;
9 mu jekpọeruro l'ẹka
igwe beru alị beru je
eduta ngu.
Mbụ l'ọo ẹka ọ kachaa
omilomi bẹ mu jeru je
ekua ngu.
Mu sụ ngu: Ị bụakwaa
onye-ozi mu.
Mu họtaakwaru ngu;
ọphu mu ajịkaekwa ngu.
10 Ọo ya bụ; ba atsụkwa ebvu;
kẹle mu nọkwa swiru
ngu.
Gẹ meji ba tọfukwa ngu;
kẹle ọ kwa mu bụ
Chileke ngu.
Mu e-me g'ike dụ ngu;
mu e-yeru ngu ẹka.
Mu e-gude ẹkutara mu ono,
bụ ẹka mu egudeje
mee iphe, pfụru ọto
ono gudeshia ngu.
11 Iphe, bụkpoo ndu aba
hanyịhanyi ekpu ngu
bẹ ọ tọ dụdu iphe,
e-me g'e te meru
iphe-iphere kpua phẹ.
Ndu etso ngu opfu bẹ ee-me;
ẹphe alaa l'iyi bụru
mkpurupyata.

12 Mbụ l'ịi-chịka ẹnya ndu
ọhogu ngu;
ị tịi hụmadu phẹ.
Ndu etso ngu ọgu a-dụepho
g'iphe-iphoro.
13 Noo kẹle ọo mbẹdua
bụ Chipfu;
bya abụru Chileke ngu;
onye sekpu ngu
l'ẹkutara ngu;
bya asụ ngu g'ị ba
tsụshi ebvu;
lẹ mu e-yeru
ngu-a ẹka.
14 “Ba atsụkwa ebvu;
gụbe nworishi ono,
bụ Jiékọpu;
mbụ gụbe nwata-une,
bụ Ízurẹlu;
kẹle ọo mbẹdua
l'onwomu e-yeru
ngu ẹka.”
Noo iphe, Chipfu epfu;
mbụ onye ono,
gbafụtaru ngu nụ ono;
bya abụru Onye nsọ
kẹ ndu Ízurẹlu.
15 Lenu; mu e-mekwa ngu
g'ị bụru iphe,
e gude echi ereshi;
mbụ iphe, bụ k'ọ̀phúú;
bya atsụ nkọ;
bya enweru ézé.

Ii-chi úbvú úbvú
gbiigbii tsutọo ya
etsutọ;
mbụ mee ya l'ọ dụ
swakịri-swakịri
g'ẹswa ereshi.
16 L'ị phụshia phẹ;
phẹrephere apakaa ya.
Mbụ oke-phẹrephere
atụkaa ya nanụnanu.
Obenu lẹ gụbedua
e-gude Chipfu ete ẹswa.
Mbụ l'ọ Onye nsọ kẹ ndu
Ízurẹlu ono bẹ ii-gude
eku onwongu.
17 “Ndu ụkpa mẹ ndu adụdu
g'ọ dụ phẹ achọ mini
angụngu.
Ọphu ọ dụdu ọphu ẹphe
hụmaru.
Ire nọdu atụ phẹ hẹehee
l'ẹka mini agụ phẹ.
Ọle ọ bụ-a mbẹdua,
bụ Chipfu a-za phẹ ẹnu.
Mbụ lẹ mbẹdua, bụ Chileke
ndu Ízurẹlu taa
hadụ phẹ.
18 Mu e-me gẹ mini wata
asọshi gẹ nggele
l'ephekerephe ẹka
dụ jakpọro jakpọro
jakpọro.
Ọgba eshi lẹ nsụda nsụda

gbafushihu.
Mu emee g'echiẹgu bụru
okpuru okpuru.
Alị, dụ jakpọro-jakpọro
abụru ẹka mini e-shi
asọshihu.
19 Iphe, mu e-ye l'echiẹgu bụ
oshi sida;
yẹe oshi akesha;
mẹkpoo oshi mịturu;
yẹe oshi olivu.
Mbụ l'oshi payịnu;
yẹe oshi fịru;
yẹe oshi sipuresu bẹ
mu a-tụko dzakọta
lẹ chakịri chakịri
chakịri alị;
20 k'ọphu ndu nemadzụ
a-hụma; tẹme ẹphe
amakwarụpho.
Ẹphe e-gbukwaa ya phọ igo;
l'oodoo phẹ ẹnya l'ọo
Chipfu gude ẹka iya
mee iphe ono;
l'ọo Onye nsọ kẹ ndu
Ízurẹlu bẹ meru
iphemiphe ono dobe."
21 Chipfu sụkwaru-a: "Unu
byanụ edoo edo k'unu."
Mbụ l'eze ndibe Jiékọpu
ono sụru-a: Unu byanụ
epfua g'ọonwuru unu.
22 Unu jenụ eduta agwa unu g'ọ

bya epfuaru anyi iphe,
e-me nụ.
Ẹphe epfukwarụpho anyi
ọphu mehawaru nụ;
k'ọphu anyi e-gbu
iya igo maru iphe,
o mechaarụ nwụfuta.
Ọdumeka; unu pfunaaru
anyi iphe,
e-mechaa mee nụ.
23 Unu pfuaru anyi iphe,
e-me l'iphu k'ọphu
anyi a-maru l'unu bụ
